**NATIONAL OPEN UNIVERSITY OF NIGERIA**

**SCHOOL OF ARTS AND SOCIAL SCIENCES**

**DEPARTMENT OF LANGUAGES**

**COURSE CODE: IGB. 321**

**COURSE TITLE: SYNTAX OF IGBO II**

**NDOKỌ AHỊRỊ OKWU IGBO**

**IGB. 321: SYNTAX OF IGBO II**

Odee: Dkt. Gerald O. Nwẹya
Ngalaba Lingwistiks na Asụsụ Afrịka, Mahadum Ibadan, Ibadan
(Department of Linguistics and African Languages, University of Ibadan, Ibadan, Nigeria.)

Onye odezi ihe ọmụmụ: Prọfesọ B. M. Onyemaechi Mbah
Ngalaba Lingwistiks, Igbo na Asụsụ Naịjiria Ndị Ọzọ, Mahadum Naịjiria, Nsụka.
(Department of Linguistics, Igbo and Other Nigerian Languages)

Onye nchịkwa ihe ọmụmụ: Prọfesọ Herbert Igboanụsị
Ngalaba Lingwistiks na Asụsụ Afrịka, Mahadum Ibadan, Ibadan
(Department of Linguistics and African Languages, University of Ibadan, Ibadan, Nigeria.)

**NATIONAL OPEN UNIVERSITY OF NIGERIA**

**NATIONAL OPEN UNIVERSITY OF NIGERIA**

National Open University of Nigeria
Headquarters
14/16 Ahmadu Bello Way
Victoria Island
Lagos

Abuja Office
91 Cadastral Zone
University Village
Nnamdị Azịkiwe Express Way
Jabi, Abuja
Nigeria

e-mail: centralinfo@nou.edu.ng
URL: www.nou.edu.ng

Published by
National Open University of Nigeria

Printed 2021

ISBN:

All Rights Reserved

| **Ndịna** | **Ihu** |
|---|---|
| Mkpọlite | |
| Mbunuche izugbe | |
| Mbunuche kpọm kwem | |
| Nkọwa ihe ọmụmụ | |
| Ngwa ihe ọmụmụ | |
| Yunit ihe ọmụmụ | |
| Akwụkwọ ọgụgụ na nrụmaka | |
| Nnwale | |
| Ihe omume | |
| Ule na enyemmaakị | |
| Usoro enyemmaakị | |
| Ndịna ihe ọmụmụ | |
| Ka ị ga-esi ritekarịcha uru ihe ọmụmụ a | |
| Ndị nkụzi na nkụzi | |
| Nchịkọta | |

**Mkpọlite**

IGB. 321 bụ ihe ọmụmụ nwere kredit abụọ, nke a na-eme n'afọ nke atọ na simesta nke izizi. E dere ya maka ụmụ akwụkwọ na-eme Igbo kpọm kwẹm. O nwere nkeji ihe ọmụmụ iri na anọ nke rụtụrụ aka n'usoro okwu na ụtọ asụsụ. E si n'asụsụ Igbo weta atụ niile e nyere n'akwụkwọ a, iji zipụta ka asụsụ Igbo si akpa agwa dị ka o si metụta usoro okwu. Usoro okwu Igbo dị oke mkpa n'amụmamụ Igbo maka na ọtụtụ nchọcha e merela na-egosi na e nwere ọtụtụ ụzọ asụsụ Igbo si dị iche n'asụsụ ndị ọzọ dị ka o si metụta usoro okwu. Nke a pụtara ihe n'etu nkeji asụsụ dị iche iche e nwere n'Igbo si akpa agwa site n'ọnọdụ ha n'ahịrị okwu. N'asụsụ Igbo, usoro okwu dị oke mkpa maka na ọ bụ ya na-enye aka igosipụta ọrụ dị iche iche mkpụrụ okwu na-arụ n'ahịrị okwu. A naghị esikarị n'ọdịdị mkpụrụ okwu amata ọrụ ya n'Igbo. Ọ na-abụkarị site ọrụ ọ na-arụ n'ahịrị okwu

Ndịna ihe ọmụmụ a ga-akọwara gị kọọsụ a na-ekwu maka ya, akwụkwọ dị iche iche ị ga-agụ na ka ị ga-esi jiri ha rụọ ọrụ. Ọ ga-agwa gị oge ole i nwere ike inye na nkeji ihe ọmụmụ ọ bụla ma gbaziere gị ka ị ga-esi mee ihe omume so ya. Ọ dị mkpa na ị na-eje klasị ka gị na ndị nkụzi kparịta gbasara ihe nhịmahụ i nwere banyere ihe ọmụmụ kọọsụ a.

**Mbunuche izugbe**

E mebere kọọsụ a iji kụziere gị usoro dị iche iche e si emebe ahịrị okwu n'asụsụ tụmadị asụsụ Igbo dị ka otu n'asụsụ, ndị a na-asụ na Naịjịrịa. Ihe ndị gbara ọkpụrụkpụ a na-atụ anya ya bụ:

a. a kụziere gị ụfọdụ okwu gbara ọkpụrụkpụ gbasara amụmamụ usoro okwu dị ka otu n'alaka amụmamụ asụsụ

b. ime ka ị hụta ka asụsụ si akpa agwa dị ka o si metụta usoro okwu na ụtọ asụsụ izugbe.

c. ime ka ị hụta ụzọ e si atụle asụsụ Igbo dị ka o si metụta usoro usoro okwu

d. izipụtara gị atụtụ mgbanwe dị ka otu n'atụtụ dị iche iche e ji atụle ahịrị okwu nke asụsụ ọ bụla tụmadị asụsụ Igbo

e. inyere gị aka izipụta ndịmiche dị na ndokọ ahịrị okwu Igbo na nke asụsụ ndị ọzọ gbara ya okirikiri

**Mbunuche dam dam**

Yunit niile e nwere n'ihe ọmụmụ a nwere mbunuche nke ya. O kwesiri ka ị gụọ ya tupu ị malite ileba anya na nkụzi e nwere na nkeji ọmụmụ ahụ. A tụrụ anya ka i mechaa nke a tupu e mechaa ihe ọmụmụ a, ị ga-enwe ike:

a. kọwaa ihe ụtọ asụsụ pụtara

b. depụta ka asụsụ ọ bụla si akpa agwa site n'ịgbado ụkwụ n'ụtọ asụsụ izugbe

c. kọwaa atụtụ ụtọ asụsụ mgbanwe na etu e si eji ya atụle asụsụ

d. gbado ụkwụ n'ụtọ asụsụ mgbanwe kọwaa usoro mwube ahịrị okwu Igbo

e. zipụta ụfọdụ ndịmiche n'usoro okwu asụsụ Igbo na asụsụ ndị ọzọ dị ka Bekee

**Usoro ihe ọmụmụ**

Ije meruo kọọsụ a n'isi ma meta ya nke ọma, ọ dị mkpa na ị gụrụ nkeji ọ bụla, gụọ akwụkwọ ọgụgụ ndị a rụgara aka nakwa akwụkwọ ndị ọzọ NOUN wepụtara. Yunit ọ bụla nwere ihe omume nke onwe so ya. N'agbata dị iche iche n'ihe ọmụmụ a, a tụrụ anya na ị ga-ezite ihe omume ndị ahụ ị mere maka ntụle. Na ngwụcha kọọsụ a, a ga-enwe ule mmechi; ọ ga-ewe ihe dị ka izu ụka iri na ise imecha ya. E depụtara ihe niile gbasara kọọsụ a n'ebe a. Ị ga-ewepụta oge gụọ nkeji ọ bụla ọfụma ka i nwee ike mee kọọsụ a ọfụma ma mechaa ya n'oge.

**Ngwa ihe ọmụmụ**

Ihe ya na ihe ọmụmụ a so gụnyere:

1. yunit ihe ọmụmụ
2. akwụkwọ ọgụgụ
3. faịl ihe omume
4. oge nzipụta ihe a mụtarala

**Yunit ihe ọmụmụ**

E nwere nkeji ihe ọmụmụ iri na anọ na kọọsụ a dị ka e si depụta ha ebe a:

**MODUL 1 ỤTỌ ASỤSỤ**

Yunit 1 Nkọwa ụtọ asụsụ

Yunit 2 Ụtọ asụsụ izugbe

Yunit 3 Nkeji asụsụ I

Yunit 4 Nkeji asụsụ II

**MODUL 2 ISI OKWU ỤFỌDỤ NA NTỤLE USORO OKWU**

Yunit 1 Nkebi okwu

Yunit 2 Ọrụ ke-ụtọ asụsụ

Yunit 3 Eserese nkebi okwu

Yunit 4 Mgbuda ahịrị okwu

**MODUL 3 ỤTỌ ASỤSỤ MGBANWE**

Yunit 1 Nkọwa ụtọ asụsụ mgbanwe

Yunit 2 Alaka ụtọ asụsụ mgbanwe

Yunit 3 Agba ala

Yunit 4 Agba elu

**MODUL 4 MGBANWE NA ỤDỊDỊ YA**

Yunit 1 Mbughari̩

Yunit 2 Mwepụ

Yunit 3 Ntinye

Yunit 4 Mgbanwerịta

Na modul 1 a, a kpọlitere ụtọ asụsụ dị ka iwu na-achịkwa akparamagwa asụsụ gburu gburu. O lebakwazịrị anya na nkeji asụsụ Igbo dị ka ihe mgbakwasa ụkwụ na ntụle asụsụ. Modul 2 lebara anya n'isi okwu ụfọdụ dị mkpa na ntụle usoro okwu dị ka nkebi okwu, ụdịdị ya, nkọwa mkpụrụ okwu ụfọdụ na ntụle usoro okwu dị ka ọdọnọ, nnọgide dg. Modul 3 na-akọwa ụtọ asụsụ mgbanwe na ụzọ dị iche iche e nwere ike ịgbaso tụlee ahịrị okwu Igbo. O lebara anya n'etu e si

hazie atụtụ a.  Modul 4 na-akọwa ụdịdị mgbanwe dị iche iche e nwere n’asụsụ Igbo. E nwere yunit iri na anọ n’ihe ọmụmụ a. Yunit ọ bụla nwere ihe ọmụmụ, nke a ga-amụ n’otu izu. Ọ gụnyere mbunobi nkụzi, ntụzi aka n’ihe ọmụmụ, akwụkwọ ọgụgụ, ihe omume nke onwe na ihe omume onye nkụzi ga-amaakị. Ihe ndị a niile na-enye aka n’imejupụta ebumnobi yunit ọ bụla nakwa nke ihe ọmụmụ a.

**Akwụkwọ ọgụgụ/Ngụmi**

Akwụkwọ ọgụgụ a bụ ngwa nkụzi kachasị mkpa n’ihe ọmụmụ a mana i nwere ike ịgụ akwụkwọ nrụmaka, ndị e depụtara n’ebe a, iji gụmie ihe ọmụmụ a nke ọma. E depụtara akwụkwọ nrụ-aka na njedebe yunit ọ bụla.

**Ihe omume**

E kewere ihe omume, ndị a ga-eme n’ihe ọmụmụ a ụzọ abụọ: ihe omume onye nkụzi ga-amaakị na ule a ha-ede. Oge a na-eme ihe omume ndị a, a tụrụ anya na a ga-etinye ihe niile a mụtara n’ihe ọmụmụ a n’ọrụ. Nwata akwụkwọ ga-ezigara onye na-akụzi kọọsụ a ihe omume niile o mere maka nlele dị ka oge ihe ọmụmụ a nakwa faịl ihe omume si kwu. Ihe omume nlele ga-ebu pasent iri atọ (30%) n’ime pasent narị (100% ) nke ihe ọmụmụ a.

**Ihe omume onye nkụzi ga-amaakị**

E nwere ihe omume onye nkụzi ga-amaakị na ngwụcha yunit ọ bụla. A tụrụ anya na nwata akwkụkwọ ga-eme nke ọ bụla n’ime ha. Onye nkụzi ga-amaakị ha niile ma họrọ maakị atọ ọ bụla kachasị mma iji nweta maakị nnwale ngawanye. Ihe omume nke ọ bụla n’ime ha bu pasent iri (10%).

Nwata akwụkwọ mechaa ihe omume ọ bụla, ọ ga-ewere ya na fọọm ihe omume zigara ha onye nkụzi. Ọ ga-agba mbọ hụ na ha ruru onye nkụzi ya aka tupu oge e nyere agafee. Ọ bụrụ na o

mechaghị ihe omume a tupu oge e agafee, ọ ga-akpọtụrụ onye nkụzi ya ma rịọ ya ka o nyetụkwuo ya obere oge.

A gaghị enye nwata akwụkwọ oge ọ bụla ma ọ bụrụ na oge e nyere maka iziga ihe omume agafechaala, belụ sọ n'ọnọdụ ajọ ọdachi.

**Ule na enyemmaakị**

Ule ikpeazụ maka IGB. 321 ga-ewe áwà abụọ ma buru pasent iri asaa (70%) n'ime maakị narị (100%). Ule ikpeazụ ga-adịkwa ka ajụjụ e zutere n'ihe omume dị iche iche e merela. A ga-anwale nwata akwụkwọ n'ihe niile a kụziiri ya n'ihe ọmụmụ a. Ọ ga-agba mbọ hụ na o ji oge e nwere n'agbata mmecha nkụzi ikpeazụ na ule gụgharịa ihe niile e mere n'ihe ọmụmụ a. Ọ ga-abakwara ya uru ma ọ gụgharịa ihe omume nke onwe na ihe omume onye nkụzi nyere tupu ule eruo.

**Usoro enyemmaakị**

Tebuul na-esote na-egosi etu a ga-esi nye maakị n'ihe ọmụmụ a.

| **Nnwale** | **Maakị** |
|---|---|
| **Ihe omume 1-4: maakị n'ime atọ kachasị mma = (10% x 3)** | **30%** |
| **Ule ikpeazụ** | **70%** |
| **Mgbakọ** | **100%** |

**Ndịna n'ihe ọmụmụ a**


| Yunit | Isi okwu | Emereme kwa izu | Ihe omume |
|---|---|---|---|
| | Mkpọlite ihe ọmụmụ | 1 | |
| | Modul 1 | | |
| 1 | Nkọwa ụtọ asụsụ | 2 | |
| 2 | Ụtọ asụsụ izugbe | 3 | |
| 3 | Nkeji asụsụ I | 4 | |
| 4 | Nkeji asụsụ II | 5 | **Ihe omume 1** |
| | Modul 2 | | |
| 1 | Nkebi okwu | 6 | |
| 2 | Ọrụ ke-ụtọ asụsụ | 7 | |
| 3 | Eserese nkebi okwu | 8 | |
| 4 | Mgbuda ahịrị okwu | 9 | **Ihe omume 2** |
| | Modul 3 | | |
| 1 | Nkọwa ụtọ asụsụ mgbanwe | 10 | |
| 2 | Alaka ụtọ asụsụ mgbanwe | 11 | |
| 3 | Agba ala | 12 | |
| 4 | Agba elu | 13 | **Ihe omume 3** |
| | Modul 4 | | |
| | | | |
| 1 | Mbughaṛị | 14 | |
| 2 | Mwepụ | 15 | |
| 3 | Ntinye | 16 | |
| 4 | Mgbanweṛịta | 17 | **Ihe omume 4** |
| | **Mgbakọ** | 18 | |


**Ka a ga-esi ritekaṛịcha uru n'ihe ọmụmụ a**

N'ụdị ihe ọmụmụ a, yunit nkụzi na-anọchi anya onye nkụzi mahadum. Uru nke a bara bụ na ọ na-eme ka e nwee ike gụọ ma mee ihe omume dị na ngwa nkụzi etu o si masị onye, n'ebe na n'oge o ji chọrọ. Ya ka o ji dị mkpa na nwata akwụkwọ hụtara nke a dị ka ịgụ ihe nkụzi kaṛịa ige onye nkụzi ntị na klasị. Etu onye nkụzi ga-esi nye nwata akwụkwọ ihe omume na klasị ka akwụkwọ a si nye ya ihe omume ọ ga-eme n'ebe o kwesiri.

N’akwụkwọ ọgụgụ a, a haziri yunit niile n’otu usoro. Isi nke mbụ na yunit ọ bụla bụ mkpọlite isi okwu, nke a ga-akụzị na yunit ahụ, ya na etu yunit ahụ si metụta nkeji nkụzi ndị ọzọ. Nke na-eso ya bụ mbunuche nkụzi. Nke a na-akọwa ihe e kwesiri ịma mà e mechaa ihe ọmụmụ. Ọ dị mkpa ka nwata akwụkwọ na-atụle ntụzi aka na mbunuche ndị a mgbe ọ na-agụ akwụkwọ a. Ọ gụchaa yunit ọ bụla, o kwesiri ịtụle ma o mejupụtara mbunuche ndị a ma ọ bụ na o mejupụtaghị ha. Ọ bụrụ na ọ na-eme etu a kwa mgbe, ọ ga-eme ọfụma n’ihe ọmụmụ a.

E nwere ihe omume nke onwe na ngwụcha yunit ọ bụla; ụsa ha dịkwa n’ime ihe ọmụmụ ọ bụla. Ime ihe omume ndị a ga-enyere nwata akwụkwọ aka imejupụta ebumnobi yunit ọ bụla ma kwadoo maka ihe omume n’ule ga-eso ya. Nwata akwụkwọ ga-agba mbọ mee ihe omume ọ bụla n’oge kwesiri na yunit ọ bụla. E nwechara atụ e nyere na yunit ọ bụla; kwesiri ịtụle ha ma o rukwute ha.

**Ndị nkụzi na ihe nkụzi**

E wepụtara awa asatọ maka ịkụzi ihe ọmụmụ a. A ga-agwa nwata akwụkwọ ụbọchị, oge na ebe a ga-eme nke a tinyere aha na akara ekwe-ntị onye nkụzi. A ga-eme nke a ozigbo e tinyere ya n’òtù nkụzi. Onye nkụzi ga-amaakị ma dee gbasara ihe omume niile, ndị ụmụ akwụkwọ mere; ọ ga-etinye uchu ịma ma ụmụ akwụkwọ ana-aga n’ihu ma ha ana-ada ada, tụmadị ihe nhịamahụ ha, iji hụ na o nyere ha aka n’ebe kwesiri mgbe oge nkụzi ihe ọmụmụ na-aga n’ihu. Nwata akwụkwọ ga-agba mbọ hụ na o zijeere onye nkụzi ihe omume ya, tupu oge e nyere agafee. Onye nkụzi ga-amaakị ya ma zighachitere ya nwata akwụkwọ n’oge na-adịghị anya.

Nwata akwụkwọ kwesiri ịkpọtụrụ onye nkụzi ya n’ekwe-ntị ma ọ bụ n’ọwa ozi i-mẹl ma ọ bụrụ na ọ chọọ enyemaka. O kwesikwara ịkpọtụrụ onye nkụzi ya ma ọ bụrụ na:

- ọ ghọtaghị akụkụ ihe ọmụmụ, yunit ma ọ bụ ihe ndị e nyere ya gụọ.

- ihe omume nnwale onwe na-enye ya nsogbu.
- ajụjụ ma ọ bụ na ihe omume na-enye ya nsogbu
- ihe onye nkụzi ya kwuru banyere ihe omume ma ọ bụ banyere maakị e nyere ya n'ihe omume ya gbagwojuru ya anya.

Nwata akwụkwọ ga-agba mbọ gee ndị nkụzi ya ntị. Ọ bụ naanị ohere a ka o nwere ịhụ ndị nkụzi ya ihu na ihu ma jụọ ajụjụ ndị a ga-aza ya ozigbo. Ha nwere ike ikwu maka nsogbu ọ bụla ọ na-enwe gbasara ihe ọmụmụ ya. Iji rite elele na nkụzi a, o kwesiri idetu ajụjụ niile o nwere tupu o jebe klasị. Ọ ga-erite nnukwu uru ma o sonye na nkụzi n'uju.

E mere IGB. 321 ka ọ dị njikere maka ileba anya n'atụtụ mgbanwe site n'ime ka ọ mara etu e si atụle usoro okwu Igbo site n'iji alaka atụtụ mgbanwe dị iche iche. Mgbe ọ na-emecha ihe ọmụmụ a, ọ ga-enwe ike kọwaa alaka atụtụ mgbanwe dị iche iche ma jiri ha na-atụle ahịrị okwu. Ọ ga-akọwali ụdị mgbanwe dị iche iche ma nye atụ ha n'Igbo.

A na-atụ anya na obi ga-atọ nwata akwụkwọ ụtọ ka ọ na-eme ihe ọmụmụ a.

Ya gazie.

| Ndịna | | Ihu akwụkwọ |
|---|---|---|
| **MODUL 1** | **ỤTỌ ASỤSỤ** | |
| Yunit 1 | Nkọwa ụtọ asụsụ | |
| Yunit 2 | Ụtọ asụsụ izugbe | |
| Yunit 3 | Nkeji asụsụ I | |
| Yunit 4 | Nkeji asụsụ II | |
| **MODUL 2** | **ISI OKWU ỤFỌDỤ NA NTỤLE USORO OKWU** | |
| Yunit 1 | Nkebi okwu | |
| Yunit 2 | Ọrụ ke-ụtọ asụsụ | |
| Yunit 3 | Eserese nkebi okwu | |
| Yunit 4 | Mgbuda ahịrị okwu | |
| **MODUL 3** | **ỤTỌ ASỤSỤ MGBANWE** | |
| Yunit 1 | Nkọwa ụtọ asụsụ mgbanwe | |
| Yunit 2 | Alaka ụtọ asụsụ mgbanwe | |
| Yunit 3 | Agba ala | |
| Yunit 4 | Agba elu | |
| **MODUL 4** | **ỤDỊDỊ MGBANWE** | |
| Yunit 1 | Mbughari | |
| Yunit 2 | Mwepụ | |
| Yunit 3 | Ntinye | |
| Yunit 4 | Mgbanwerịta | |

**MODUL 1 ỤTỌ ASỤSỤ**


Yunit 1 Nkọwa ụtọ asụsụ
Yunit 2 Ụtọ asụsụ izugbe
Yunit 3 Nkeji asụsụ I
Yunit 4 Nkeji asụsụ II


**Yunit 1 Nkọwa ụtọ asụsụ**

**Ndịna**


1.0 Mkpọlite

2.0 Mbunuche

3.0 Ndịna dam dam

3.1 Nkọwa ụtọ asụsụ

3.2 Uru ụtọ asụsụ bara n'amụmamụ asụsụ

Uru usoro mmebe okwu bara

4.0 Mmechi

5.0 Nchịkọta

6.0 Ihe omume

7.0 Nrụmaka/ngụmi


**1.0 Mkpọlite**

N'ihe ọmụmụ a, a ga-akọwa ihe ụtọ asụsụ putara. Oge ụfọdụ, nwata akwụkwọ na-enwe mgbagwojuanya n'ịkọwa ihe ụtọ asụsụ pụtara. Ihe ọmụmụ a ga-ewepụ ụdị mgbagwojuanya a n'ihi na a ga-akpọlite echiche ụfọdụ na-agbata mmadụ n'obi oge a na-ekwu maka ụtọ asụsụ. . N'ebe a, a ga-akọwa mpụtara dị iche iche a na-enweta oge a na-ekwu maka ụtọ asụsụ, uru ụtọ asụsụ bara n'amụmamụ asụsụ na etu usoro okwu si metụta ngalaba amụmamụ asụsụ ndị ọzọ dị ka akpọmakpọ, usoro mkpụrụ ụda, usoro mmebe okwu, na echiche. Nkeji nkụzi a ga-enyere nwata akwụkwọ aka ịghọta ụtọ asụsụ na uru ọ bara, ntụle usoro okwu nakwa alaka amụmamụ asụsụ ndị ọzọ.

## 2.0 Mbunuche

Na ngwụcha nkụzi a, e bu n'obi na nwata akwụkwọ ga-enwe ike:

a. kọwaa mpụtara dị iche iche ụtọ asụsụ nwere
b. depụta uru ụtọ asụsụ bara n'amụmamụ asụsụ
c. ziputa ka usoro okwu na ngalaba amụmamụ asụsụ ndị ọzọ si emetụta.

## 3.0 Ndịna kpọm kwẹm

### 3.1 Nkọwa ụtọ asụsụ

E nwere ụzọ dị iche iche e si ahụta nkeji ahịrị a bụ 'ụtọ asụsụ'. Mana n'ihe ọmụmụ a, a ga-ahụta ya dị ka iwu na ntụ wubere asụsụ. Ọ na-akọwa usoro ọdịdị asụsụ ọ bụla. E nwekwara ike ịsị na ọ bụ ntọ ala, nke onye ọ bụla na-asụ asụsụ nwere, nke na-enyere ya aka iji asụsụ ya rụọ ọrụ n'ozuzu oke. Ya bụ, ọ bụ iwu asụsụ dị n'uche mmadụ, nke na-enyere ya aka ịkparịta ụka. O metụtara iwu na-achị ndokọ, mkpọpụta na nghọta mkpụrụ, nkeji na ahịrị okwu nakwa ịgbaso usoro ya n'ịsụ na ide asụsụ ahụ. Fromkin, Rodman na Hyams (2011) kọwara na ụtọ asụsụ na ọkọwa okwu dị na ngwa mmata asụsụ mmadụ, nke na-egosi nka mmadụ nwere n'ịsụ asụsụ. Ya bụ, iji ghọta asụsụ ọ bụla, ọ dị mkpa na a ga-aghọta ntọnala ya, ya bụ ụtọ asụsụ ya.

Onye ọ bụla, nke bụ mmadụ, nwere asụsụ ọ na-asụ ma bụrụ nke ọ ma ụtọ asụsụ ya. Oge ọ bụla ndị ọka asụsụ chọrọ ịkọwa ụtọ asụsụ ọ bụla, ọ bụ iwu ndị ahụ dị n'echiche mmadụ ka ha na-akọwa. Ọ bụ iwu ndị ahụ ka ndị nwe asụsụ na-agbaso n'ịsụ asụsụ ha. Oge ụfọdụ, a na-enwe obere ndịmiche n'etu ndị na-asụ otu asụsụ si asụ asụsụ ha. Mana a na-enwekwazị iwu jịkọrọ ha ọnụ. Ọ bụ iwu ndị ahụ jịkọrọ ha ọnụ na-eme ka ha ghọta onwe ha oge ha na-asụ asụsụ ha. Oge a na-eleba anya n'asụsụ, ọ dị mkpa ịgbakwasị ụkwụ n'etu ndị nwe asụsụ sị asụ ya n'otu oge. Ọ bụghị etu ha kwesiri isi na-asụ ya. Ụtọ asụsụ na-enyere ndị ọka asụsụ aka ịghọta etu ndị nwe asụsụ si eme mkpebi gbasara ekwerekwu e kwuru ọfụma na nke e kwuteghị ọfụma. Ọ bụrụ na a sị na e kwutara okwu ọfụma, nke a pụtara na okwu ahụ dabara n'etu ndị nwe asụsụ ahụ si asụ ya. Mana ọ bụrụ na e kwutaghị ya, a mara na ọ dara iwu ụtọ asụsụ nke asụsụ ahụ. Iji maa atụ, onye ọ bụla na-asụ Igbo, mara na Igbo bụ asụsụ ụda olu. Ọ bụrụ na e tinyeghi ụda olu ebe o kwesiri, o nwere ike ibute nghọtahie ma ọ bụ mgbagwo echiche. A sị na ahịrị okwu dabara adaba, a mara na o dobere iwu asụsụ ahụ. Ya bụ na echiche mmadụ na-egosipụta, n'ozuzu oke, ụtọ asụsụ nke

asụsụ ọ bụla mmadụ na-asụ. Ọ bụ site na ya ka e ji amata etu asụsụ a na-eleba anya na ya si akpa agwa. Ọ bụ ya mere e ji asị na ụtọ asụsụ bụ mma mmụta asụsụ. Ka ọ dị ugbu a, ndị nchọcha na-agba mbọ iji atụtụ dị iche iche na nka n'ụzụ aghọta etu e si ahazi ụtọ asụsụ n'echiche mmadụ. Site na nkọwa e nyerela, a ga-achọpụta na ọ bụghị naanị otu nghọta ka ụtọ asụsụ nwere. Taiwo (2010) na-akọwa na e nwere ike ịghọta ụtọ asụsụ dị ka:

a. ihe niile ọsụ asụsụ mara banyere asụsụ ya
b. amụmamụ asụsụ, nke gbadoro ụkwụ naanị n'usoro mmebe okwu na usoro mwube ahịrị okwu
c. Usoro nkọwa asụsụ nke e bipụtara dị ka akwụkwọ ụtọ asụsụ
d. Ogo nnabata ekwerekwu, nke e ji anabata ekwerekwu dabara adaba n'otu asụsụ ma ọ bụ nke ọzọ

**Ụtọ asụsụ dị ka echiche ọsụ asụsụ nwere banyere asụsụ**

Onye na-asụ asụsụ epum bụ onye na-asụ ya ka asụsụ mbụ ọ mụtara. A ga-akọwa onye ahụ dị ka onye mara asụsụ ahụ, nke ọma n'ihi na ọ na-asụ ya ka asụsụ ala ya. Ọ na-eji ya amụ asụsụ ndị ọzọ ma ọ na-etolite. A tụrụ anya na ọ ga-ama ndokọ asụsụ ya, etu e si akpọpụta ụda niile dị n'asụsụ ya, etu e si ejikọ mkpụrụ echiche (mọfịm) wee mebeta mkpụrụ okwu ọhụrụ, na etu a ga-esi jiri mkpụrụ okwu mebee ahịrị okwu n'asụsụ ahụ. Chomsky (1957) kọwara na echiche a ọsụ asụsụ nwere banyere asụsụ ya bụ mbudo ọnatara-chi na-enyere ya aka ịsụ asụsụ ya. Oge ọ bụla a chọrọ ileba anya n'asụsụ ọ bụla, ọ bụ echiche a ka ndị ọka asụsụ na-agbado ụkwụ iji kọwaa asụsụ n'ihi na ọ na-ezipụta iwu ndị ahụ na-achịkwa asụsu. Fromkin, Rodman na Hyams (2011:4) kọwara na onye ọ bụla ma asụsụ nke ọma kwesiri inwe mmụta gbasara ihe ndị a:

1. *Ọmụma usoro akpọmụda:* Otu mpaghara ịma asụsụ bụ ọmụma usoro akpọmụda. Nke a gụnyere ịma mkpụrụ ụda niile e nwere n'asụsụ ahụ. Nke a na-apụta n'etu e si akpọpụta okwu n'asụsụ. Onye mara asụ naanị otu asụsụ dị ka Igbo agaghị akpọpụtacha ụda ụfọdụ e nwere na Bekee. Oge ụfọdụ, ọ na-ewere mkpụrụ ụda Igbo dochie nke Bekee na-adịghị n'Igbo oge ọ na-ekwu okwu. Ịma atụ, iji t /t/ dochie *th* /θ/ oge a na-akpọpụta okwu dị ka 'thing'. N'otu aka ahụ, onye na-asụ naanị Bekee nwekwara ike iji mkpụrụ ụda Bekee,

nke na-adịghị n'Igbo dochie nke Igbo n'ihi na ọ maghị ka e si akpọpụta ya. Ịma atụ, ọsụ asụsụ nwere ike ịkpọpụta *Chukwu* dị ka *Chu**ku*** site n'iji /k/ dochie /$k^w$/ maka na ọ maghị akpọpụta ya. Ya bụ, mmadụ ịma asụsụ gụnyere ịma mkpụrụ ụda niile, nke otu asụsụ na etu e si ewabata ha oge a na-akpọpụta okwu.

2. *Ọmụma mkpụrụ okwu na echiche ha*: Ịma mkpụrụ okwu dị n'asụsụ na echiche ha so n'otu ụzọ e si achọpụta onye mara asụsụ ọ bụla. Asụsụ ọ bụla nwere ihe ha na-akpọ ihe. Onye mara asụsụ Igbo kwesiri izipụtali ndịmiche dị n'etiti *nkịta* na *okerekwu*. Ka mmadụ na-eto n'asụsụ ya ka ọnụ ọgụ mkpụrụ okwu ọ mara ga na-abawanye.

3. *Ọmụma ekwurekwu bụ ahịrị okwu na ndị abụghị ahịrị okwu n'asụsụ.* Echiche mmadụ nwere dị ka onye ma asụsụ ya nke ọma na-enyere ya imebete ahịrị okwu enwe obe n'asụsụ ya. Ọ ga-enyekwazịrị ya aka ịchọpụta ma ahịrị okwu adabara n'asụsụ ka ọ bụ na ọ dabaghị. Oge ọ bụla e nwere ekwumekwu, ndị nwe asụsụ na-amata ma ọ bụ ahịrị okwu gbasoro iwu usoro okwu nke asụsụ ahụ ma ọ bụ na ọ bụghị.

**Ụtọ asụsụ dị ka amụmamụ usoro mmebe okwu na usoro mmebe ahịrị okwu** N'amụmamụ asụsụ, usoro mmebe okwu na usoro mwube ahịrị okwu bụ ngalaba ndị mbụ e lebara anya na mmalite amụmamụ asụsụ n'ihi na e were ha dị ka ngalaba dị oke mkpa. N'ihi nke a, e nwere ike ịrụgara nke ọ bụla n'ime ha aka oge a na-ekwu maka ụtọ asụsụ. N'oge a na-amụ naanị Griik na Latin, ha abụọ bụ ngalaba gbanyere mgbọrọgwụ amụmamụ asụsụ. Ya mere na e nwere ike ịkpọ iwu na-achịkwa nke ọ bụla n'ime ha ụtọ asụsụ n'ọnọdụ ụfọdụ.

**Ụtọ asụsụ dị ka nkọwa akparamagwa asụsụ**

E nwere ike ịghọta ụtọ asụsụ dị ka nkọwa akparamagwa otu asụsụ ma ọ bụ nke ọzọ. Oge ọ bụla mmadụ na-akọwa etu asụsụ si akpa agwa, ọ bụ ụtọ asụsụ ya ka ọ na-akọwa. N'ọnọdụ a, e nwere ike isite n'ụdị nkọwa ụtọ asụsụ banyere asụsụ a na-ekwu maka ya.

**Ogo nnabata ekwerekwu**

N'amụmamụ asụsụ, e nwere ike ịghọta ụtọ asụsụ dị ka ime mkpebi gbasara ekwurekwu, nke na-egosi na ihe e kwuru dabara ma ọ bụ na ọ dabaghị n'iwu ya. Oge ụfọdụ, ndị nwe asụsụ na-eme mkpebi site n'ịnabata ekwurekwu dị ka nke gbasoro ụtọ asụsụ. N'ụzọ dị etu a, e nwere ike ikwu na ụtọ asụsụ na-enyere mmadụ aka ime mkpebi gbasara okwu kwesiri nnabata na nke na-ekwesighi nnabata n'asụsụ.

**Ụtọ asụsụ dị ka atụtụ usoro okwu**

N'amụmamụ asụsụ n'oge ugbu a, e nwere ike ịhụta ụtọ asụsụ dị ka iwu na ọdọnọ e ji atụle usoro okwu. A na-eji iwu ndị a eleba anya n'asụsụ dị iche iche iji mata etu ha si akpa agwa ma wepụta iwu ndị jikọrọ ha ọnụ na ndị jisara ha ejisa. Ọ bụ n'ụzọ dị etu a ka e si nweta ihe a na-akpọ ụtọ asụsụ izugbe nakwa atụtụ dị iche iche e ji eleba anya n'usoro okwu nke asụsụ ga. Otu n'ime ha bụ atụtụ mgbanwe, nke a ga-eleba anya na ya n'uju n'ihe ọmụmụ a.

**Nnwale onwe**

- Kọwaa echiche abụọ i nwere gbasara ụtọ asụsụ.
- Depụta ụzọ ihe atọ a tụrụ anya n'aka onye mara asụsụ ya nke ọma.

3.2. **Uru ụtọ asụsụ bara**

Ụtọ asụsụ bụ mma mmụta asụsụ. N'oge ugbu a, ọ bụ asụsụ ka mba dị iche iche ji akwalite obodo ha. Nke a agaghị ekwe omume ma ọ bụrụ na e nweghi ụtọ asụsụ a ga-agbado ụkwụ na ya. N'ihi nke a, ụtọ asụsụ bara uru ndị a:

1. Ọ bụ ụtọ asụsụ ka e ji akụzi asụsụ ọ bụla. Ya bụ, ọ na-enye aka n'ịkwalite amụmamụ asụsụ mba ụwa niile ọkachasị ugbu a, mgbe e ji kọmputa amụ ma na-atụle asụsụ. N'ihi nke a, ndị ọka asụsụ na kọmputa na-agbasi mbọ ike ka e jiri kọmputa na-arụ ọrụ asụsụ.

2. Ụtọ asụsụ bakwara uru na mwube atụtụ dị iche iche, ndị e ji eleba anya n'asụsụ izugbe. N'ụbọchị ta a, e nwere atụtụ dị iche site n'aka ndị ọka asụsụ dị ka Noam Chomsky, M.A.K. Halliday dg. Ọ bụ site n'ịgbado ụkwụ n'akparamagwa asụsụ dị iche ka e si wube iwu asụsụ izugbe na ntụ asụsụ ndị.

3. Amamamụ ụtọ asụsụ na-enye aka iwubenye ọdịdị ụdịdị asụsụ na kọmputa. Ugbu a, a na-elebanye anya n'etu kọmputa si enyere mmadụ aka arụ ọrụ asụsụ ụfọdụ dị ka nsụgharị na imepụta ọkọwa okwu dg.

4. Ụtọ asụsụ na-enyere ndị ọka asụsụ aka ịhụ etu asụsụ si eto ma ọ bụ agbanwe. Nke a na-enye aka ịmata ụzọ e ji akwado asụsụ ka ọ ghara ịnwụ.

5. Ụtọ asụsụ na-enye aka n'odide nakwa n'ọgụgụ asụsụ. Ọ bụ site n'ịgbaso iwu ụtọ asụsụ ka e si amụta etu e si ede ma na-agụ ederede n'asụsụ ọ bụla.

6. Ụtọ asụsụ na-enye aka n'ichekwa asụsụ ka ọ ghara ịnwụ. E nwere ụfọdụ asụsụ na-anwụzị anwụ, e nwere ike isite n'amụmamụ ụtọ asụsụ kpọlitekwa asụsụ ahụ.

## 4.0 Mmechi

N'ihe ọmụmụ a, e lebara anya na mpụtara ụtọ asụsụ. E gosiri echiche dị iche iche ụtọ asụsụ na-ezipụta. A kọkwazịrị uru ụtọ asụsụ bara n'amụmamụ asụsụ. Nkeji nkụzi a gosiri na ụtọ asụsụ nwere nkọwa dị iche iche. Ọ bụ onye na-eleba anya n'asụsụ ka ọ dịịrị ịchọpụta echiche a na-ekwu maka ya.

## 5.0 Nchịkọta

Na nkeji nkụzi a, a kọwara ụtọ asụsụ dị ka iwu na-achịkwa asụsụ. E nwere mpụtara dị iche iche ọ na-ezipụta. O nwere ike ịpụta ihe niile mmadụ mara gbasara asụsụ ya. O nwekwzịrị ike bụrụ amụmamụ mmebe okwu na usoro okwu. Oge ụfọdụ, a na-ahụta ya dị ka atụtụ usoro okwu dg. E depụtakwazịrị uru dị iche iche ụtọ asụsụ bara ọkachasị n'amụmamụ asụsụ. Nkeji nkụzi na-egosi na o siri ike ịtụle asụsụ ọ bụla n'ebughi ụzọ ghọta etu ụtọ asụsụ ahụ si dị.

## 6.0 Ihe omume

i. Kọwaa n’uju echiche atọ gbara ọkpụrụkpụ ụtọ asụsụ na-ezipụta.

ii. Depụta uru ise ụtọ asụsụ bara

## 7.0 Nrụmaka/ngụmi


Chomsky, N. (1957). *Syntactic structures*. The Hague: Mouton.

Chomsky, N. (1965). *Aspects of the theory of syntax*. Cambridge: MIT Press.

Fromkin V, Rodman, R & Hyams, N (2011). *An introduction to language (mbgh. nke 9).* Australia: Wadsworth.

Halliday, M. A. K. & Mathiessen C.M.I.M (2014). *Introduction to functional grammar (Mbgh. nke 4).* New York: Routledge.

Mbah B. M, & Mbah, E. E (2014) *Atụmatụ amụmamụ asụsụ*. Nsụka: University of Nigeria Press Ltd.

Radford, A. (2009). *Analysing English sentences: A minimalist approach.* New York: Cambridge University Press.

Taiwo, O. (2010). LIN. 321 Transformational grammar 1: Ndetụ ihe nkụzi. Mahadum Ibadan, Naịjirịa

## Yunit 2 : Ụtọ asụsụ izugbe

**Ndịna**


1.0 Mkpọlite

2.0 Mbunuche

3.0 Ndịna kpọm kwẹm

    3.1 Ụtọ asụsụ izugbe

4.0 Mmechi

5.0 Nchịkọta

6.0 Ihe omume onye nkụzi ga-amaakị

7.0 Nrụmaka/ngụmi


### 1.0 Mkpọlite

Na nkeji nkụzi nke mbụ, e labara anya n'ụtọ asụsụ. A kọwara na ụtọ asụsụ bụ iwu, ndị wubere ọdịdị asụsụ. E kwukwara na e nweghi otu nkọwa zuru oke gbasara ụtọ asụsụ. N'ihe nke a, e nwere ike ịkọwa ya n'ụzọ dị iche iche. Mana o kwesiri ka a mata na nkọwa a metụtara ngalaba asụsụ niile dị ka usoro mkpọpụta mkpụrụ ụda, usoro mmebe okwu, usoro ndokọ ahịrị okwu. N'agbanyeghị nke a, ndị ọka asụsụ chọpụtara site n'ileba anya n'asụsụ dị iche iche, na asụsụ na-eyitewe onwe ha n'ụzọ dị iche iche. Ọ bụ n'ihi nke a ka e ji tụpụta usoro nkọwa asụsụ, nke a na-akpọ ụtọ asụsụ izugbe. Nkeji nkụzi a gbadoro ụkwụ n'akparamagwa ndị ahụ asụsụ nwekọrọ ọnụ.

### 2.0 Mbunuche

Na ngwụcha nkụzi a, e bu n'uche na nwata akwụkwọ ga-enwe ike:

a. kọwaa mpụtara ụtọ asụsụ izugbe.
b. depụta uru ụtọ asụsụ izugbe.
c. tụlerịta echiche Noam Chomsky na nke Joseph Greenberg gbasara ụtọ asụsụ.

## 3.0 Ndịna kpọm kwẹm

### 3.1 Ụtọ asụsụ izugbe

N'amụmamụ asụsụ, a na-agba mbọ ịchọpụta ihe asụsụ mba ụwa niile nwekọrọ ọnụ nakwa etu ha sị dị iche n'ibe ha. A na-eme nke a site n'ileba anya n'asụsụ ole na ole n'otu oge. Ụfọdụ ndị gbarala mbọ maka nke a bụ Noam Chomsky na Joseph Greenberg. Ọ bụ agbam mbọ ndị a mere ka e nwee usoro, nke a na-akpọ atụtụ izugbe. Atụtụ izugbe na-akọwa na asụsụ mba ụwa niile nwere njirimara ndị jịkọrọ ha ọnụ. N'echiche Noam Chomsky, e nwere ihe ndị na-agba aka ebe gbasara echiche a. Otu n'ime ha bụ na o kwenyere na ọ bụ otu usoro ka a na-agbaso amụta asụsụ mba ụwa niile n'ihi na ikike mmadụ nwere ịmụta asụsụ dị n'ụbụrụ mmadụ. Nke pụtara na ọ bụ ngwa mmata asụsụ ebumpụta ụwa. Ọ bụghị ihe a na-akụziri mmadụ akụzi. Nke a ka ọ kpọrọ 'ụbịam njali gburu gburu'. Nke a pụtara na nwata na-amụ asụsụ na-amụta karịa ihe ọ nụrụ na ntị ma ọ bụ nke a kụziri ya; nke ọ nụrụ na ntị pere nnukwu mpe ma a tụnyere ya ihe ọ na-ekpwupụta.

N'aka nke ọzọ, Joseph Greenberg kọwara na ụtọ asụsụ izugbe gbadoro ụkwụ na nchọpụta, nke na-egosi na asụsụ niile nwere iwu ha nwekọrọ ọnụ. Na nchọcha ya, nke lebara anya n'ụtọ asụsụ, nke asụsụ iri atọ si n'agbụrụ asụsụ dị iche iche, ọ chọpụtara na o nwere iwu na-achịkwa etu asụsụ niile si akpa agwa. O kewara iwu ndị a ụzọ atọ, mmebe okwu izugbe, usoro okwu izugbe na echiche izugbe. N'agbanyeghi na echiche Greenberg na nke Chomsky abụchaghị otu, ha na-arụgara otu ihe aka. Ihe ahụ bụ na asụsụ niile nwere ebe ha yitere onwe ha ma nwekwazie ebe ha si dị iche. N'ebe a, a ga-akọwa myiri na ndịmiche ụfọdụ e nwere n'asụsụ nke na-akwado ụtọ asụsụ izugbe.

1. Asụsụ ọ bụla nwere mkpụrụ ụda asụsụ, dị ka ụda ume na mgbochiume. Asụsụ ọ bụla nwere ụda ndị a mana etu nke ọ bụla si eji ha emebe okwu dị iche site n'otu asụsụ ruo n'ọzọ. Ịma atụ, Igbo izugbe nwere ụda ume asatọ na mgbochi ume iri abụọ na asatọ, ebe Yoruba izugbe nwere mgbochi ume iri na asaa na ụda ume asaa.

2. Asụsụ niile nwekwara ụzọ ha si ezipụta njụ. Ịma atụ, na Bekee, a na-eji mkpụrụ echiche nnọọrọ onwe dị ka 'not' 'never' 'un- dg; n'asụsụ Yoruba, ha na-eji *kò, ò, màá* dg mana n'asụsụ Igbo, a na-eji *-ghị, -rọ, -là, -beghi* dg. Nke a na-egosi na iziputa njụ bụ njirimara asụsụ niile kama na ọnọdụ mmkpụrụ echiche e ji ezipụta ya n'usoro okwu anaghị abụ

otu. N’ụfọdụ asụsụ, ọnọdụ ya nwere ike ịbụ tupu isi ngwaa dị ka ọ na Bekee (*I will **not** come).* O nwekwara ike isote isi ngwaa dị ka ọ dị n’Igbo (bịa**ghị**). N’asụsụ ụfọdụ, mkpụrụ echiche njụ na-apụta ihe dị ka mkpụrụ echiche nnọọrọ onwe mana n’asụsụ ndị ọzọ, o nwere ike bụrụ mkpụrụ echiche ndabe.

3. Asụsụ niile nwere etu ha si ezipụta oge ihe a na-ekwu maka ya mere. Kama ọ bụghị otu ụzọ ka ha si eme nke a. Ụfọdụ asụsụ dị ka Igbo na Bekee nwere mkpụrụ echiche e ji ezipụta ngosi oge mana asụsụ Yoruba enweghi nke a. Ụfọdụ na-esipụta naanị ihe ga-eme n’ọdịnihu ma ọ bụ ihe mere n’oge gara aga dị ka Yoruba na Igbo. Ha na-ezipụta ngosi oge ndịnugbu site n’iji mkpụrụ echiche ngosi ngawanye.

4. O nwere nkeji asụsụ ndị zuru asụsụ niile ọnụ dị ka mkpọ aha, ngwaa, mbu ụzọ, nkọwa na nkwuwa. Asụsụ niile nwere nkeji asụsụ ndị a mana ha niile enweghi otu akparamagwa ma ọ bụ ọdịdị. Ọ bụ n’ihi nke a ka e ji nwee akara izugbe e ji egosipụta nkeji asụsụ ndị a n’amụmamụ asụsụ.

**5.** Asụsụ niile nwere usoro okwu nke na-akọwa etu mkpụrụ okwu si esote onwe ha n’ahịrị okwu. Cheta na ahịrị okwu ọ bụla na-enwe isi ahịrị, ngwaa na nnara. Mana usoro ha abụghị otu n’asụsụ niile. N’ụfọdụ asụsụ, dị ka asụsụ Zama, nnara nwere ike ibu ngwaa ụzọ n’ahịrị okwu (Hụ Jayeola 2016). N’aka nke ọzọ, nnara na-esote ngwaa mgbe niile n’ahịrị okwu mgbe niile dị ka ọ dị n’Igbo.

**Nnwale onwe**

- Kọwaa echiche Chomsky gbasara ụtọ asụsụ izugbe.
- Họrọ asụsụ ọ bụla masịrị gị ma tụlekọrịta ya na asụsụ Igbo site n’idepụta myiri atọ na ndịmịche atọ dị n’etiti ha abụọ.

## 4.0 Mmechi

Na mmechi, nkeji ihe ọmụmụ a tụlere ihe ụtọ asụsụ izugbe pụtara. Ọ dị ụzọ ihe atọ e lebara anya n’isi okwu a. Ha bụ nkọwa ụtọ asụsụ izugbe, uru ụtọ asụsụ izugbe bara nakwa akparamagwa

asụsụ e ji akwado ụtọ asụsụ izugbe. Ụtọ asụsụ izugbe a, e meela ka amụmamụ asụsụ na-etowanye site na mmekọrịta ndị ọka asụsụ na mpaghara mba ụwa dị iche iche.

## 5.0 Nchịkọta

Na nchikọta, nkeji ihe ọmụmụ kọwara na ụtọ asụsụ izugbe na-ezipụta akparamagwa asụsụ mba ụwa dị iche iche nwekọrọ ọnụ, nke na-enye aka na ntụle asụsụ. Ndị ọka asụsụ abụọ kwadoro ụtọ asụsụ izugbe. Ha bụ Noam Chomsky na Joseph Greenberg. Chomsky na-akọwa na mmadụ, ọkachasị nwata, nwere ngwa mmata asụsụ ọnatara chi, nke na-enyere ya aka ịmụta asụsụ ọ bụla o zutere. N'ihi nke a, ọ ga-amụta asụsụ ahụ karịa ka e si kụzierele ya. N'aka nke ọzọ, Greenberg na-akwado echiche ụtọ asụsụ izugbe site n'akparagwa asụsụ nwekọrọ dị ka o si metụta usoro okwu, mmebe okwu na echiche. E lebakwara anya n'uru ụtọ asụsụ izugbe bara ọkachasị n'amụmamụ asụsụ.

## 6.0 Ihe omume

i. Kọwaa echiche Noam Chomsky gbasara ụtọ asụsụ izugbe.

ii. Depụta akparamagwa ise asụsụ dị iche iche nwekọrọ ọnụ.

iii. Tụlekọrịta echiche Joseph Greenberg na nke Noam Chomsky dị ka o si metụta ụtọ asụsụ izugbe

## 7.0 Nrụmaka/ngụmi


Chomsky, N. (1957). *Syntactic structures*. The Hague: Mouton.

Chomsky, N. (1965). *Aspects of the theory of syntax*. Cambridge: MIT Press.

Crystal, D. (2008). *Dictionary of linguistics and phonetics (mbgh nke 6)* Malden: Blackwell.

Fromkin, V., Rodman, R. and Hyams, N. (2011). *An introduction to language (9th ed.)* Australia: Wardsworth Cengage Learning

Lewis, M. Paul, Gary F. Simons, & Charles D. Fennig (Ọhz.). 2013. *Ethnologue: Languages of the world, mbgh. nke 7.* http://www.ethnologue.com.

Nwẹya, G. O. (2014). Language and linguistics (LIN. 101): Ndetụ ihe nkụzi. Mahadum Ibadan, Ibadan.

Yule, G. (1996). *The study of language.* Cambridge: Cambridge University Press.

Halliday, M. A. K. & Mathiessen, C.M.I.M (2014). *Introduction to functional grammar. (mbgh nke 4).* New York: Routledge.

Mbah B. M, Mbah E. E (2014). Atụmatụ amụmamụ asụsụ. Nsụka: University of Nigeria Press Ltd.

Radford, A. (2009). *Analysing English sentences: A minimalist approach.* New York: Cambridge University Press.
Taiwo, O. (2010). LIN 321. Transformational grammar 1: Ndetụ ihe nkụzi. Mahadum Ibadan, Naịjirịa

**Yunit 3 Nkeji asụsụ**

1.0 Mkpọlite

2.0 Mbunuche

3.0 Ndịna kpọm kwẹm

- 3.1 Nkeji asụsụ
- 3.2 Mkpọ aha
- 3.3 Ngwaa
- 3.4 Nkọwa
- 3.5 Nkwuwa
- 3.6 Mbu ụzọ

4.0 Mmechi

5.0 Nchịkọta

6.0 Ihe omume onye nkụzi ga-amaakị

7.0 Nrụmaka/ngụmi

## 1.0 Mkpọlite

Na nkeji nkụzi a, a ga-eleba anya na nkeji asụsụ Igbo. N'amụmamụ usoro okwu ọ bụla, nkeji asụsụ dị oke mkpa n'ihi na ọ bụ site na ya ka e si enweta mkpụrụ okwu e ji ewube ahịrị okwu ọ bụla dabara adaba n'asụsụ a na-ekwu maka ya. Asụsụ niile nwere nkeji asụsụ mana akparamagwa na ọdịdị nkeji asụsụ ndị a nwere ike dị iche site n'otu asụsụ gaa n'ọzọ. N'iwube ahịrị okwu Igbo, site n'ịgbado ụkwụ n'ụtọ asụsụ mgbanwe, ịmata nkeji asụsụ mkpụrụ okwu dabara na ya dị oke mkpa. N'ihi nke a, ọ dị mkp ka e lebaa anya na nkeji asụsụ Igbo.

## 2.0 Mbunuche

Na ngwụcha nkụzi a, e bu n'obi na nwata akwụkwọ ga-enwe ike:

a. depụta nke na ụdị nkeji asụsụ e nwere n'Igbo
b. kọwaa nkeji asụsụ ndị a n'otu n'otu
c. depụta akparamagwa atọ e ji mara nkeji asụsụ nke ọ bụla

## 3.0 Ndịna kpọm kwẹm

### 3.1 Nkeji asụsụ

Nkeji asụsụ bụ ọrụ mkpụrụ okwu na-arụ dị ka ọnọdụ, ụda na nghọta ya si dị n'ahịrị okwu, ebe ọ dị. Mbah (2011) kọwara na nkeji asụsụ e ji atụle asụsụ ugbu a malitere n'aka ndị Griik. Ọ bụ na nke a ka Bekee na Latin gbadoro ụkwụ wee wepụta nkeji asụsụ e ji atụle asụsụ ruo ugbu a. Asụsụ niile nwere nkeji asụsụ ndị ha nwekọrọ ọnụ ma nwekwaa nke ụfọdụ asụsụ nwere naanị ha. Nke a pụtara na ọ bụghị iwu na nkeji asụsụ dị na Bekee ga-adịrịrị na Frẹnch nakwa n'Igbo. Kama ọ dị mkpa ikwu na ọ bụ nkeji asụsụ ka e ji egosipụta ọrụ mkpụrụ okwu ọ bụla na-arụ n'asụsụ. O nwere mkpụrụ okwu ndị nwere echiche n'aka ha. Oge ọ bụla a na-ekwu maka ha, ọ ga-enweriri echiche ga-agbata mmadụ n'obi. Ya bụ, e nwere ike ịkọwapụta etu ha dị ma ọ bụ ihe ha na-ezipụta. Radford (2009) kọwara ndị a dị ka nkeji asụsụ nke ukwu. Ha gụnyere mkpọ aha, ngwaa, nkọwa aha, nkwuwa na mbu ụzọ. Nkeji asụsụ ndị a bụ ozuru mba ọnụ n'ihi na o nweghi asụsụ na-enweghi ha; kama, akparamagwa ha abụghị otu n'asụsụ niile. Dị ka e kwurula, ha na-ezipụta echiche nwere nkọwa. Ịma atụ, *ụgbọ ala* bụ mkpọ aha oge ọ bụla a kpọrọ, ihe ga-agbata mmadụ n'echiche bụ ihe nwere ụkwụ anọ na-agba n'okporo ụzọ. Emeka bụ mkpọ aha n'ihi na ọ na-egosi aha mmadụ. *Iko* bụ mkpọ aha n'ihi na ọ bụ ihe e nwere ike iji gbanye ihe dị mmiri mmiri. Mana e kwuo ihe dị ka 'na', o nweghi ọkpụrụkpụ ihe ga-agbata mmadụ n'echiche. Ọ bụ ndị nwere ụdị akparamagwa a ka na-akpọ nkeji asụsụ nke nta. Na nkụzi a, anyị ga-eleba anya na nkeji asụsụ nke ukwu bịa lebazie anya na nkeji asụsụ nta na yunit nke na-esonye. Nkeji asụsụ nke ukwu gụnyere mkpọ aha, nkọwa aha, ngwaa na nkwuwa.

**Nnwale onwe**

Gịnị bụ nkeji asụsụ?

### 3.2 Mkpọ aha

Mkpọ aha bụ mkpụrụ okwu ọ bụla, nke e ji egosi aha n'ahịrị okwu. Mbah (2006, 2011), na nchịkọta, kọwara ya dị ka aha ihe (hụkwa Raford 2009:2). O nwere ike ịrụ ọrụ dị ka isi ahịrị, nnara na mmeju ngwaa. Ndị ọka asụsụ ekewaala mkpọ aha ụzọ dị iche iche. Mana a gbado ụkwụ n'usoro ọdịnala, e nwere ụdị mkpọ aha isii (hụ Mbah & Mbah 2014:29). Ha gụnyere aha aka, aha izugbe, aha nhụrụnanya, aha nhụrụnuche, aha ngụta na aha igwe.

a) **Aha aka**: Nke a bụ aha, nke e ji mara ihe, nke a na-akwanyere ugwu. Ọ bụkwa aha e ji ahụba ihe ama. A na-ejikarị nnukwu abịchịị ukwu amalite ya. Ọ na-abụkarị aha mmadụ, aha anụmanụ, aha ebe, aha akwụkwọ, aha ụbọchị, aha ọnwa, aha ahịa, wdg. Ọmụma atụ: Chukwuebuka, Chiamaka, Ibadan, Mọnde, Maachị, Eke Ọka, wdz.

b) **Aha izugbe**: Nke a bụ aha ihe, ndị enweghi ugwu ka aha ka. Ọ bụ aha e nwere ike isi na ya nweta aha ihe ndị ọzọ. Ọ bụkwa aha a na-akpọ ihe dị n'ụdịrị, anụmanụ, oche, azụ, ahịa, mmadụ, ụgbọ ala, ụgbọ elu, wdg.

c) **Aha ngụta ọnụ**: Ndị a bụ aha ndị e nwere ike ịgụta ọnụ dị ka mmadụ, ụgbọ, ite, dg. Ha nwere ike ịbụ aha izugbe, aha nhụrụnuche ma ọ bụ aha nhụrụnanya.

d) **Aha igwe**: Nke a bụ aha, nke a na-akpọ ihe, ndị a na-enweghi ike ịgụta ọnụ, d.k, aja, osikapa. garị. A na-eji mkpụrụ okwu na-egosi ụfọdụ agụ ha ọnụ, d.k. iko osikapa anọ, agbụgba aja iri

e) **Aha nhụrụnanya***:* Ndị a bụ aha a na-ahụ anya ma ọ bụ metụ aka. Ha nwekwara ike ịbụ aha aka ma ọ bụ aha izugbe dị ka nwoke, ji, ede dg.

f) **Aha nhụrụnuche**: Nke a bụ aha a na-akpọ ihe, nke e nweghi ike ịhụ anya; e ji echiche amata na ha dị, d.k, ịhụnanya, iwe, agụrụ, ndidi, agamnihu, aṅụrị, wdg.

E nwekwara nkewa mkpọ aha ndị ọzọ ma a gbado ụkwụ n'ụda olu nakwa na nkeji okwu. (Maka ndị a, hụ Mbah, 2006, 2011, Mbah & Mbah, 2014, Emenanjọ, 2015). N'asụsụ Igbo, o siri ike ịgbado ụkwụ n'ọdịdị iji mata ma okwu Igbo ọ bụ mkpọ aha ma ọ bụ na ọ bụghị. Ọ bụ ọnọdụ ha n'ahịrị okwu na-egosipụta ha dị ka mkpọ aha. Mkpọ aha nwere ike ịrụ ọrụ dị ka isi ahịrị, nnara, orite, mmeju.

**Nnwale onwe**

1. Depụta ụdị mkpọ aha isii e nwere.
2. Kọwaa njirimara mkpọ aha

## 3.2 Ngwaa

Ngwaa bụ ngalaba nkeji asụsụ na-ekwu ihe na-eme n'ahịrị okwu. Ọ bụ mkpụrụ okwu na-ezipụta ihe isi ahịrị na-eme ma ọ bụ ọdịdị ya n'ahịrị okwu. Ọ bụ ya ka e ji kpọọ ya mkpụrụ okwu emereme. Ndị ọka asụsụ akọwaala na ọ bụ naanị ngwaa bụ nkeji asụsụ na-anabata mgbakwụnye n'asụsụ Igbo. E nwere ike isi na ya mebete ọtụtụ mkpụrụ okwu dịnyere na nkeji asụsụ ndị ọzọ mana o nweghi nkeji asụsụ e si na ya emebete ngwaa. N'ihi nke a, a na-asị na Igbo bụ asụsụ ngwaa. Ọ bụ ngwaa na-ebu mgbakwụnye e ji ezipụta oge (je-**re**), ndịmecha je-**e**-**la**, njụ (je-**ghị**) na umezi (je-**riri**). Nchọcha e meelara na-egosi na ngwaa Igbo anaghị akwụkarị naanị ya n'ahịrị okwu. E wezuga ngwaa ụfọdụ dị ka *bi (n'Aba)*, *nọ (ala)*, *kwụ (ọtọ)*, ọtụtụ ngwaa Igbo na-enwe o pekata mpe otu mgbakwụnye oge ọ bụla e webatara ha n'ahịrị okwu. Ya mere Mbah na Mbah (2014) ji kwuo na ukwu ngwaa nwere alaka dị iche iche. Ha bụ nnyemaka ngwaa, nganihu ngwaa, isi ngwaa, nsonazụ ngwaa dg.

**Nnyemaka ngwaa**: Nke a bụ mkpụrụ okwu nwere ike ịkwụ n'onwe ya. Mbah na Mbah (2014:36) rụrụ ụka na ọ na-enyere ngwaa aka ịnọzi anọzị ma rụpụta ọrụ ya ọfụma. Ha gụnyere na, ga, ka, ma, dị, ji dị ka n'ahịrị okwu ndị a.

(1) a. Uchenna na-esi nri.
 b. Obinna ka-arụ ọrụ unya ahụ.
 ch. Udoka dị-eje ụlọ.
 d. Amaka ga-alụ di.
 e. Odo ji abịa.
 f. Achike ama abịa.

N'atụ ndị a, nnyemaka ngwa nwere ike ịrụ ọrụ dị ka izipụta ndịnoge ngawanye (na, dị) ma ọ bụ ọdịnihu (ga).

**Nganihu ngwaa**: Nke a bụ akụkụ ukwu ngwaa, nke na-ebute isi ngwaa ụzọ ma na-esote nnyemaka ngwaa. Ya na nnyemaka ngwaa na-enyekọdoro ngwaa aka n'ịrụ ọrụ ya nke ọma. Oge a dabere n'isi ngwaa, a na-akpọ mme-ka-ngwaa. Nwẹya (2018) na-ekwu na nnyemaka ngwaa na mme-ka-ngwaa na-arụkọ ọrụ izipụta ndịnoge dị iche iche, ọmụma atụ:

(2) a. Anyị na-**a**sụ ụtara.
b. Udoka ga-**a**gba osiarị.

**Isi ngwaa**: Isi ngwaa bụ isi sekpụ ntị n'ukwu ngwaa. Mbah na Mbah 2014 na-akọwa na ọ bụ ya bu echiche ukwu ngwaa ma na-ezipụta emereme isi ahịrị. Isi ngwaa na-abụkarị otu mgbochi ume na ụda ume na-esote ya. N'asụsụ Igbo, ihe atụ isi ngwa nwere gụnyere:

(3) a. bụ
b. si
c. je
d. gwu

**Nsonazụ ngwaa**: Nke a bụ akụkụ ngwaa na-eso isi ngwaa. O nwere ike ịbụ mgbakwụnye mgbatị okwu dị ka si-**ri** ma ọ bụ mgbakụnye mmebe okwu dị ka *seba-ta.*

### 3.3 Nkọwa aha

Nkọwa aha bụ mkpụrụ okwu na-akọwa aha ma ọ bụ mkpọ aha. N'ihi nke a, o nwere ọnọdụ pụrụ iche, nke ọ na-anọ n'ahịrị okwu oge ọ na-arụ ọrụ a. N'asụsụ Igbo, nkọwa nwere ike ịnọ ọnọdụ abụọ na nkebi okwu. O nwere ike ibu ụzọ ma ọ bụ sote mkpọ aha dị ka

(4) a. nwoke ogologo
b. ogologo nwoke
c. nwoke ọjọọ
d. ajọ nwoke

N'atụ ndị a, okwu nke abụọ n'ihe atụ 4(a) na (b) bụcha nkọwa. Ha na-eso mkpọ aha ha na-akọwa. N'aka nke ọzọ, nkọwa aha nwere ike isote ngwaa, d.k.

(5) a. Okoeke dị *ọcha*.
b. Amaoke mara *mma*.
ch. Mz. Nji dị *nji*.

N'atụ 5, okwu ndị e degọrọ edegọ na-arụ ọrụ dị ka nkọwa aha. N'ihi na ha na-abụ mkpọ aha ma na-arụ ọrụ nkọwa, a na-akpọ ha aha nkọwa.

**Nnwale onwe**

3. Kọwaa akparamagwa nkọwa aha atọ e nwere.

## 3.4 Nkwuwa

Nkwuwa bụ nkeji asụsụ na-ekwuwanye maka ngwaa. Ya bụ, ọ na-ekwu banyere etu, oge, ebe na ihe kpatara e ji mee emereme ngwaa. Ha nwekwara ike ikwuwanye maka nkwuwa ọzọ. Nkwuwa n'àsụsụ Igbo gụnyere *nnọ̀ọ́, kpam, ọfụma, gboo, ugbu/kita* dg. Ịma atụ,

(6) a. Ọ gwụchara *kpam.*

b. O mere ya *ọfụma.*

ch. Ọ bịara *ugbu* a.

d. Ó detara ya *nnọọ ọfụma.*

E lee anya n'ọmụma atụ ndị a, a ga-achọpụta na ọ dị ka nkwuwa dị n'àsụsụ Igbo pere mpe n'ọgụ. N'agbanyeghị ọnọdụ a, e nwere ụzọ di iche iche ndị Igbo sì ezìpụta nkwuwa. Otu n'ime ha bụ ime okwu ejìma. Oge ọ bụla e mere nkejì asụsụ́ ndị ọzọ ejìma, ha na-ezipụta echiche nkwuwa. Lezie anya n'atụ ndị a:

(7) a. Ngọzi na-eme *ara ara.*

b. Uche mere *ọsọ ọsọ.*

ch. O bere *obube obube.*

d. Ọ na-eme *onukwu onukwu.*

e. Ọ na-aga *vụga vụga.*

f. Ọ na-atọ *bịrị bịrị.*

g. Ọ na-asụ *pụtụ pụtụ* n'ofe.

gb. Ọ na-ekwu *nwayọọ nwayọọ.*

gh. Ọ bịara ebe a *ugboro ugboro.*

gw Ọ na-eme *aghara aghara.*

h. Odo na-eje *ọnwụ ọnwụ.*

Site n'ime okwu ndị a ejima, ha ziputara echiche nkwuwa. N'ụzọ dị etu a, e nwere ike inweta ọtụtụ nkwuwa n'àsụsụ Igbo. Na nchịkọta, a kọwara na nkwuwa na-egosi oge ihe ji mee, ebe ihe mere, etu ihe si mee na ihe kpatara ihe ji mee. E nwere ụdị nkwuwa ndị a n'asụsụ Igbo dị ka ọrụ ha si dị. Ha gụnyere:

**Nkwuwa nke oge**: Nke a bụ nkwuwa na-ekwu oge ihe ji mee. Ha bụ *ugbu/kita, echi, ụnya ahụ, gboo, ta a* dg. Ọmụma atụ:

(8) a. Ọ bịara ebe a **ta a.**

b. O siri nri **ugbu/kita** a.

ch. Ọ lara **gboo.**

d. Ọ ga-eje ahịa **echi.**

f. Ha riri akpụ **ụnya ahụ.**

**Nkwuwa nke etu***:* Nkwuwa ndị a na-ekwu etu ihe siri mee. A na-ejikari mkpụrụ okwu dị ka *ọfụma, ọzọ, nwayọọ, ọsọ* dg. Ọmụma atụ

(9) a. I mere ya **ọfụma.**

b. O siri ji **ọzọ.**

ch. O fere **nwayọọ.**

d. O jere **ọsọ.**

**Nkwuwa nke ebe**: Nke a, bụ nkwuwa na-ekwu ebe ihe nọrọ mee. A na-ejikarị *ebe* eziputa nke a n'asụsụ Igbo.

(10) a. Ọ tụtụtara ya **ebe** a.

b. O rụrụ ụlọ **ebe** ahụ.

**Nkwuwa nke mkpatara***:* Nke a bụ nkwuwa na-ekwu ihi, nke ihe jiri mee. Ha bụ maka/n'ihi na. Ọmụma atụ

(11) a. Ọ nwụrụ **n'ihì** ajọ omume ya

b. Ọ lara **maka** nwanne ya.

**Nnwale onwe**

4. Kọwaa nkwuwa na ụdịdị, nke e nwere n'Igbo.
5. Depụta njirimara nkwuwa Igbo abụọ.

### 3.4. Mbu ụzọ

Mbu ụzọ bụ okwu na-ezipụta ebe ihe dị ma ọ bụ ọnọdụ mkpọ aha n’ahịrị okwu. Nchọcha e merela n’asụsụ dị iche iche na-egosi na o nwere ọnọdụ abụọ o nwere ike ịnọ n’asụsụ. O nwere ike ibu mkpọ aha ụzọ dị ka ọ dị n’Igbo ma ọ bụ sote ya dị ka n’asụsụ Tọki. E nwere arụmụka gbasara mbu ụzọ ole e nwere n’Igbo. Emenanjọ (1978, 2015) na-ekwu na ọ bụ naanị otu mbu ụzọ ‘na’ ka e nwere n’Igbo mana e ji okwu ndị ọzọ esipụta echiche mbu ụzọ ebe Mbah na-ekwu na e nwere ụdị mbu ụzọ atọ n’Igbo (hụ Mbah 1999). Mbu ụzọ na-eburu mkpọ aha ụzọ oge ọ na-arụ ọrụ a. Iji maa atụ,

(12) a. Obi zụrụ akwa n’Ọnịcha.

b. Bụharị arịtuola n’ọkwa.

b. Owo esiela ncha na Legọs.

ch. Uche na-agba bọọlụ n’Imirike.

N’atụ ndị a, a ga-achọpụta na a na-edebiri ‘na’ edebiri ma ọ bụrụ na mkpọ aha na-eso ya malitere na mgbochi ume. N’aka nke ọzọ a na-edezu ya edezu ma ọ bụrụ na mkpọ aha na-eso ya malitere na mgbochi ume. N’agbanyeghi na ọ bụ naanị ‘na’ bụ mkpọ aha pụtara ihe n’asụsụ Igbo. E nwere mkpụrụ echiche ndị ọzọ na-ezipụta echiche mbu ụzọ, d.k. màkà, bànyéré na gbàsárá. Maka ndị a, hụ Ọjị (1987), Mbah (1999, 2018) na Uchechukwu na Mbah (2010).

**Nnwale onwe**

6. Kọwaa mbu ụzọ
7. Depụta ụzọ abụọ e si ede mbu ụzọ Igbo.
8. Kọwaa nkwuwa na ụdịdị e nwere n’Igbo
9. Depụta njirimara nkwuwa abụọ gbasara nkwuwa n’Igbo

## 4.0 Mmechi

Na mmechi, nkeji ihe ọmụmụ a tụlere nkeji asụsụ, ndị gbara ọkpụrụkpụ e nwere n’Igbo. Ha dị ise n’ọnụ ọgụ. Nkeji asụsụ ndị ụdị nke na ụdị asụsụ e nwere ike imebe enyo ha n’echiche mmadụ oge a na-ekwu okwu. Ha pụtara ihe n’asụsụ mba ụwa niile. A kọwara ọdịdị ha na ọrụ ha na-arụ

n'asụsụ Igbo. Ọ bụ ha mejupụtara ọtụtụ mkpụrụ okwu, ndị e nwere n'asụsụ, nke a na-ewebata oge a na-ewube ahịrị okwu.

## 5.0 Nchịkọta

Na nchikọta, nkeji ihe ọmụmụ a kọwara na nkeji asụsụ bụ ọrụ mkpụrụ okwu na-arụ dị ka ọnọdụ ya si dị n'ahịrị okwu. Ndị e lebara anya n'ihe ọmụmụ a bụ ndị a kpọrọ nkeji asụsụ ukwu. Ha gụnyere mkpọ aha, ngwaa, nkọwa, nkwuwa na mbu ụzọ. Ọ bụ ha bụ nkeji asụsụ gbara ọkpụrụkpụ dị n'asụsụ niile. N'Igbo, e nwere usoro dị iche iche a na-agbaso akọwa mkpọ aha. Mana nke a gbasoro n'ebe a bụ usoro ọdịnala. E lebakwara anya na ngwaa na ụdịdị ya, nkwuwa na ụdịdị ya, nkọwa nakwa mbu ụzọ. A kọwara ọrụ ha na-arụ na ọnọdụ ha na-anọ n'ahịrị okwu.

### 6.0 Ihe omume

1. Depụta nkeji asụsụ ise gbara ọkpụrụkpụ ma kọwaa ihe jịkọtara ha ọnụ.
2. Depụta ụzọ ihe ise e ji mara mkpọ aha Igbo.
3. Kọwaa nkwuwa na ụdịdị e nwere n'Igbo
4. Kọwaa alaka ngwaa ukwu na ọrụ ha.
5. Kọwaa mbu ụzọ
6. Depụta ụzọ abụọ e si ede mbu ụzọ Igbo.

## 7.0 Nrụmaka/ngụmi


Emenanjọ, E. N. (1978). *Elemenmts of modern Igbo grammar*. Ibadan: Oxford University.

Emenanjọ, E. N. (2015). *Contemporary Igbo grammar: Constituents, features and processes.* Port Harcourt: M & J Grand Orbit and Linguistics Association of Nigeria.

Mbah, B. M. (1999). *Studies in syntax: Ìgbò Phrase Structure*. Nsukka: Prize Publishers.

Mbah, B. M. (2011). *GB syntax: A minimalist theory and application to Igbo*. Enugu: CIDJAP Press.

Mbah, B. M. (2010). The category incorporated preposition in Igbo. Na C. Uchechukwu & B. M. Mbah (Ọhz.). *The preposition in Igbo.* Onitsha: Edumail

Mbah, B. M. (2018). *Generalised Igbo syntax*. Awka: Amaka Dreams Ltd

Mbah B. M, & Mbah E. E (2014) *Atụmatụ amụmamụ asụsụ*. Nsụka: University of Nigeria Press Ltd.

Nwẹya, G. O. (2014). Igbo Grammar I. LIN. 221: Ndetụ ihe nkụzi. Mahadum Ibadan, Naịjiriạ.

Nwẹya, G. O. (2013). Mmetụta dị n'etiti usoro okwu na echiche. *Ekwe: Jọnalụ otu jikọrọ ndị ji edemede akwalite asụsụ na omenala Igbo, alaka ya nke Naịjiriạ.* Awka: Igbo Scholars

Forum. Vọl. 1. Nọ. 1, 112-131.
Ọjị, N. (1987). The Igbo preposition or prepositions. *Olu: Journal of linguistics students association*. Nọ. 1.
Radford, A. (2009). *Analysing English sentences: A minimalist approach.* New York: Cambridge University Press.
Uchechukwu & Mbah, B.M. (2010). *The preposition in Igbo.* Onitsha: Edumail

**Yunit 4: Nkeji asụsụ II**

1.0 Mkpọlite

2.0 Mbunuche

3.0 Ndịna kpọm kwẹm

3.1 Nkeji asụsụ nsinọrụ

3.2 Nnọchi aha

3.3 Nrụ aka

3.4 Njikọ

3.5 Nsọkwụnye

4.0 Mmechi

5.0 Nchịkọta

6.0 Ihe omume onye nkụzi ga-amaakị

7.0 Nrụmaka/ngụmi

## 1.0 Mkpọlite

Na Yunit nke atọ, a tụlere nkeji asụsụ nke ukwu site n’ileba anya n’ọdịdị, ụdịdị na ọrụ ha na-arụ n’asụsụ. Mana n’ihe ọmụmụ a, a ga-eleba anya na nkeji asụsụ ndị ahụ bụ naanị ọrụ ụtọ asụsụ ka ha na-arụ. Ha anaghị enwe nghọta nke onwe ha belụ sọ n’oge e tinyere ha n’ahịrị okwu ma ọ bụ na nkebi okwu. Na mgbe mbụ, a na-eche na ha abaghị uru ka nkeji asụsụ nke ukwu dị ka mkpọ aha, ngwaa, nkọwa na nkwuwa mana etu ọ dị ugbu a, ndị ọka asụsụ kwenyere site na nchọcha na ọ bụ ha bụ isi sekpụ ntị na ntụle asụsụ n’ihi na ha ‘anụ ahụ’ na ‘ọbara’ ụtọ asụsụ (hụ Ouhalla, 1991). Ọ na-akpalite ndịmiche dị n’echiche ewumewu asụsụ. Ihe ọmụmụ a ga-eleba anya n’ụfọdụ nkeji asụsụ ndị a.

## 2.0 Mbunuche

Na ngwụcha nkụzi a, e bu n’obi na nwata akwụkwọ ga-enwe ike:

a. depụta nkeji asụsụ nke nta e nwere n’Igbo.
b. kọwaa nkeji asụsụ ndị a n’otu n’otu.
c. depụta akparamagwa atọ, ndị e ji mara nkeji asụsụ nke ọ bụla.

## 3.0 Ndịna kpọm kwẹm

### 3.1 Nkeji asụsụ ndị nta

E wezuga nkeji asụsụ ndị nke ukwu ise gbara ọkpụrụkpụ a kọwarala, e nwere nkeji asụsụ ndị nke nta. Okwu ndị dabara na nkeji asụsụ ndị a anaghị enwe echiche nke aka ha. N'ihi ya, o nweghi echiche na-agbata mmadụ n'obi oge a na-ekwu maka ha. Iji maa atụ, ọ bụrụ na mmadụ sị 'a' ma ọ bụ 'ha', o nweghi echiche ga-agbata ọnụụ n'obi. N'ihi nke a, ọ bụ naanị ọrụ ụtọ asụsụ ka ha na-arụ. Ha gụnyere nnọchi aha, nrụ aka, isi nkebi ahịrị, mkpokọta, nnyemaka ngwaa dg. Ọ gụnyekwazịrị ngosi oge, ndịnoge na njụ. Mana a gaghị eleba anya na ndị a, a kpọrọ aha ikpeazụ. Iji gụmi gbasara ngosi oge, ndịnoge na njụ, hụ Ụwalaka (1997), Ikekeọnwụ, Ezikeojiakụ, Ụbanị na Ugọjị (1999) Emenanjọ (2015) na Nwẹya (2018, 2021) dg. Ihe na-esote ugbu a bụ nkọwa ụfọdụ nkeji asụsụ nke nta.

**Nnọchi aha**

Nke a bụ okwu, ndị e ji anọchite mkpọ aha ka a ghara ịkpọ ya ugboro ugboro. N'Igbo, nnọchi aha na-ezipụta ọnụ ọgụ dị ka mkpoolu na ụbara. A gbado ụkwụ na nsirihụ, e nwere ike ịkọwa ya site n'ọnọdụ okwuu, ọnụụ na onye ma ọ bụ ihe a na-ekwu maka ya. Nke a ka e ji ezipụta onye nke mbụ, onye nke abụọ na onye nke atọ. Ha na-anọkwa n'ọnọdụ niile mkpọ aha na-anọ n'ahịrị okwu dị ka isi ahịrị, nnara, mmeju na ọnọdụ nnwe. Mbah na Mbah (2014:32) na-akọwa na ọ bụ naanị ụdị nnọchi aha abụọ ndị a pụtakarịsịrị ihe n'Igbo. Ha bụ nnọchi onye na nnọchi enwe onye.

Nnọchi onye bụ nke e ji anọchi anya onye ma ọ bụ ihe a na-ekwu maka ya. Ha na-enwe mkpoolu (mkp.) na ụbara (ụb.)

| (1) | Isi ahịrị | nnara |
|---|---|---|
| | 1mkp: m | 1mkp: m |
| | 2mkp: ị/ị | 2mkp: gị |
| | 3mkp: o/ọ | 3mkp: yá |
| | 1ụb: ànyị | 1ụb: ànyị |
| | 2ụb: unù | 2ụb: unù |
| | 3ụb: ha | 3ụb: ha |

Nnọchi aha ndị a na-egosi na ọ bụ naanị o/ọ na i/ị bụ ndị na-anọ naanị n'isi ahịrị. Ndị ọzọ nwere ike ịnọ n'ọnọdụ isi ahịrị na nke nnara.

Nnọchi enwe onye bụ nnọchi aha na-enweghi onye ọ na-arụtụ aka kpọm kwẹm. A na-ezipụta ya site n’iji a/e. Nsirihụ ya bụ onye nke atọ.

**Nnwale onwe**

- Depụta ahịrị okwu ise gbasara nnọchi aha.
- Zipụta ndịmiche n’etiti nnọchi onye na nnọchi enwe onye.

## 3.2 Nrụ aka

Nrụ aka bụ mkpụrụ okwu na-arụtụ aka n’isi okwu a na-ekwu maka ya kpọm kwẹm. Ọ na-anọdewe aha ọ na-arụtụ aka iji nwee echiche. Ya bụ, ọ na-esote aha ma ọ bụ okwu ọ na-akọwa. Ha dị naanị abụọ n’asụsụ Igbo: *a* na *ahụ*. Lezie atụ ndị a.

(2) a. Ụlọ **a** mara mma.

b. Ụlọ **ahụ** jọrọ njọ.

N’ebe a, *‘a’* na *‘ahụ’* bụ nrụ aka. Ha na-egosi ụlọ a na-ekwu maka ha. Ha na-akpa agwa n’ụzọ ndị a:

(a) ‘a’ na-egosi na ihe a na-ekwu maka ya dị ǹsó. Ịma atụ: Oche **a**, ụlọ **a**, akwụkwọ **a**.

(b) ‘ahụ’ na-egosi na ihe a na-ekwu maka ya bụ ihe onye a na-agwa mara maka ya ma dịtee aka, d.k. onye **ahụ**, eze **ahụ**.

**Nnwale onwe**

- Kọwaa nrụ aka.
- Jiri atụ dabara nke ọma kọwaa ọrụ nrụ aka ‘a’ na ‘ahụ’ na-arụ n’ahịrị okwu.

## 3.2 Njikọ

Njikọ bụ okwu na-ejikọ mkpụrụ okwu na mkpụrụ okwu, nkebi okwu na nkebi okwu, nkebi ahịrị na nkebi ahịrị ma ọ bụ ahịrị okwu na ahịrị okwu. Ọ bụ ya bụ naanị nkeji asụsụ nwere ike ijikọ

ụdị okwu dị iche iche n’asụsụ Igbo. Ha gụnyere na, ma, ka, kwa, kama, mana, tupu, kamgbe, kama na, maka na, mgbe, ebe, etu dg.

E kewara njikọ n’asụsụ Igbo ụzọ abụọ gbara ọkpụrụkpụ

(a) Njikọ nnọọrọ onwe
(b) Njikọ ndabe

**Njikọ nnọọrọ onwe**

Nke a bụ njikọ ndị ahụ na-ejikọ mkpụrụ okwu, nkebi okwu ma ọ bụ nkebi ahịrị dị abụọ ma ọ bụ karịa, ndị nwere ike ịkwụrụ onwe ha (Ụba-Mgbemena 2006). Ya bụ na mkpụrụ okwu, nkebi okwu ma ọ bụ nkebi ahịrị nke ọ bụla ga-enwe ike ịkwụrụ onwe ya nwee nghọta ma ọ bụ echiche, ịma atụ

(3) a. jị na ede
b. ma m ma gị
ch. ka nwoke ka nwaanyị
d. Ha bịara mana ha ahụghi anyị

**‘Na’ dị ka njiko nnọọrọ onwe**

Oge ‘na’ na-ọrụ dị ka njikọ nhata nha, ọ na-ejikọ mkpụrụ okwu na mkpụrụ okwu, nkebi okwu na nkebi okwu ma ọ bụ nkebi ahịrị na nkebi ahịrị nwere ike ịkwụrụ onwe ya, d.k.

(4) a. Ji na ede bụ oke nri n’ala Igbo.
b. Anyị hụrụ eze n’ụlọ ụka **na** n’ahịa.
ch. Chụka chọrọ inwe ego **na** ịrụ ọrụ.
d. Ha chọrọ onye mara mma **na** onye topuru nmadụ.

**‘Mana’ dị ka njikọ nnọọrọ onwe**

Oge ‘mana’ na-ọrụ ọrụ ka njịko nnọọrọ onwe, ọ na-ejikọ naanị ahịrị okwu na ahịrị okwu dị nhata nha, d.k.

(5) a. Obi nwere ego **mana** ọ naghị eme ngara.

b. Ada mara mma **mana** ọ dịghị ike ọrụ.

ch. Obi abịaghị nzukọ ta a **mana** ọ ga-abịa echi.

d. Mmiri ezoghi ta a **mana** o zoro ụnya ahu.

**‘Ka’ dị ka njikọ nnọọrọ onwe**

Ka nwere ike ijiko ahịrị ajụjụ abụọ dị nhata nha dị ka n’atụ ndị a na-esonu:

(6) a. Ha riri ji **ka** ha riri ede?

b. Ọ mụrụ nwoke **ka** ọ mụrụ nwaanyị?

ch. Ị chọrọ m **ka** ị chọrọ nwa m?

O nwekwara ike ijikọ mkpụrụ okwu ma ọ bụ ahịrị okwu abụọ ha nhata nha.

(7) a. **Ka** nwoke ka nwaanyị.

b. **Ka** okenye ka ụmụ aka bịara oriri ahụ.

**‘Ma’ dị ka njikọ nnọọrọ onwe**

‘Ma’ nwere ike ịrụ ọrụ dị ka njikọ nhata nha. Oge ọ na-arụ ụdị ọrụ a, ọ na-enwe echiche “tikọnye/tinyere” ma….ma. Ya na ‘ka’ na-enwe otu echiche. Tụlee atụ ndị a.

() a. **Ma** ụmụ nwaanyị ma ụmụ nwoke bịara ta a.

b. Uche kwetara **ma** n’ihu nne ya ma a’ihu nna ya na ọ bụ ya tiwara ite ahụ.

ch. Obi na-enyeju ụmụ ya afọ **ma** mgbe o nwere ego ma mgbe o nweghi ego.

**‘Ma ọ bụ’ dị ka njikọ nnọọrọ onwe**

*‘Ma ọ bụ’* nwere ike ịrụ ọrụ dị ka njikọ nnọọrọ onwe site n’ijikọ mkpụrụ okwu na mkpụrụ okwu, nkebi okwu na nkebi okwu, nkebi ahịrị na nkebi ahịrị ma ọ bụ ahịrị okwu na ahịrị okwu. Tụlee atụ ndị a:

(8) a. Kpọọ Okoro ma ọ bụ Okoafọ.
b. Jewe ahịa ma ọ bụ ọrụ.
ch. Chọọ ya n'ụlọ ma ọ bụ n'ahịa.
d. Gwa anyị ma ị ga-abịa ma ọ bụ na ị gaghị abịa.

**'Nke' dị ka njikọ nnọọrọ onwe**

Dị ka njikọ nnọọrọ onwe, *nke* na-ejikọkari ahịrị njụ na ahịrị njụ. Oge nke a mere, ahịrị njụ nke abụọ na-adị n'ụdị nkwe, d.k.

(9) a. Ike abịaghị nke Uche na-abịa.
b. Ike abịaghị, Uche abịaghị.
ch. Enweghi m nne nke m ji enwe nna.

**'Kama' dị ka njikọ nnọọrọ onwe**

Oge 'kama' na-arụ ọrụ dị ka njikọ nhata nha, ọ na-ezipụta atụbaghi anya dị n'ihe ahịrị okwu, nke abụọ na-ekwu; ọ na-ekwugharị n'ụzọ nkwe ihe e kwuru n'ụzọ njụ n'ahịrị okwu nke abụọ. Ọmụma atụ:

(10) a. Nne gị ga-abịa *kama* ọ gaghị ebutere gị nri.
b. Eze bụ ezigbo mmadụ *kama* o nweghi ego.
ch. Ude bịara ọrụ *kama* o bughi ngwa ọrụ.

**Nnwale onwe**

- Gịnị bụ njikọ?
- Depụta ụdị njịkọ abụọ e nwere.
- Kedụ ọrụ dị iche iche njikọ nnọọrọ onwe na-arụ n'asụsụ.

**Njikọ ndabe**

Njikọ ndabe na-ejikọ o peka mpe otu mkpụrụ okwu, nkebi okwu ma ọ bụ nkebi ahịrị nnọrọ onwe na nke ndabe. Mkpụrụ okwu, nkebi okwu ma ọ bụ nkebi ahịrị nke ndabe ahụ agaghị akwụli n'onwe ya nwee nghọta n'adabeghi na nke nnọrọ onwe. Ụdị njikọ a na-apụtakarị ihe n'ahịrị ukwu. Ọ na-ezipụta echiche nkwuwa. Ha gụnyere mgbe, tupu, kamgbe, dg., d.k.

(11) a. Anọ m mgbe o ji bịa
b. Ha bịara ebe a tupu ọ nwụọ
ch. Ọ nọ ebe a kamgbe ụnya ahụ

Njikọ ndị nwere ike ịrụ ọrụ dị ka njikọ ndabe gụnyere 'na', 'ma', 'ka', 'maka', 'makana', 'tupu', 'kama', 'kamgbe', 'tutuu' dg. Tụlee atụ ndị a.

(12) a. Eze sịrị na ike agwụla ya.
b. Gwa nna gị na anyị ga-abịa echi.
ch. Ọ nọ ebe a kamgbe ụnya ahụ.
d. Ha bịara ebe a tupu ọ nwụọ.
e. Anọ m mgbe o ji bịa.
f. Ọ bịara ka o gbuo m.
gb. Anyị bịara maka ịzọpụta unu.
gh. Aga m abụ ọgaranya kama ịbụ ohu.

**Nnwale onwe**

- Kọwaa njikọ ndabe.
- Depụta mkpụrụ echiche ndị na-arụ ọrụ dị ka njikọ ndabe.
- Depụta ndịmiche dị n'etiti njikọ nhatanha na njikọ ndabe na m.

## 3.3 Nsọkwụnye

Nsọkwụnye bụ mperimpe okwu ma ọ bụ mkpụrụ okwu na-etinyeso echiche n'ahịrị okwu. Ha nwere ike iso okwu niile ma e wepụ mbu ụzọ. N'ihi nke a, o nwere ike ịnọ ebe ọ bụla n'ahịrị okwu. Ọtụtụ oge, ọ na-anọdewe ngwaa, mkpọ aha na nkọwa aha. Ọ bụrụ na o sote ngwaa, a na-edekọta ha abụọ ọnụ mana o sote nkeji asụsụ ọzọ, e desaa ha edesa. O kwesiri ka a ghọta na nsọkwụnye abụghị ngwaa ma ọ bụ nsonazụ n'ihi na o nwere ike iso okwu ndị ọzọ tinyere ngwaa; nsonazụ na-eso naanị ngwaa n'ahịrị okwu. Nsọkwụnye e nwere n'asụsụ Igbo gụnyere *cha, kwa, fụ, kwanụ,* ọmụma atụ:

(13) a. Ihe ndị a bụ**cha** ihe oriri
b. Ihe ndị a **cha** bụ ihe oriri
ch. Ihe ndị a bụ ihe oriri **cha**
d. Onye **kwa** bụ onye ahụ?
e. Onye bụ**kwa** onye ahụ?
f. Onye bụ onye ahụ **kwa**?

E lee anya n'atụ ndị a, a ga-achọpụta na echiche ọ na-etinye n'ahịrị okwu bụ nke nkwuwanye. Ọmụma atụ ndị ọzọ gụnyere:

(14) a. Gịnị **kwanụ** bụ ihe ahụ?
b. Gịnị bụ**kwanụ** ihe ahụ?
ch. Gịnị bụ ihe ahụ **kwanụ**?

**Nnwale onwe**

- Kọwaa nsọkwụnye.
- Depụta ọrụ ndị nsọkwụnye na-arụ n'ahịrị okwu.

## 4.0 Mmechi

Na mmechi, nkeji ihe ọmụmụ a lebara anya na nkeji asụsụ kenta. Ọ kọwara na ha bara uru dị ka nkeji asụsụ keukwu na mwube ahịrị okwu. Ọ bụ ha na-akpalite ndịmiche dị na ndokọ ahịrị okwu

n’etiti asụsụ dị iche iche e nwere na mba ụwa. Otu ihe pụtara ihe bụ na ha anaghị enwe echiche nke aka ha. Ọ naanị mgbe e webatara na nkebi okwu ma ọ bụ ahịrị okwu ka ọrụ ha na-apụta ihe. N’agbanyeghị nke a, ọ dị mkpa ka amata ọrụ ndị ahụ ha na-rụ n’ụtọ asụsụ

**5.0 Nchịkọta**

Na nchịkọta, nkeji ihe ọmụmụ kọwara nkeji asụsụ nke nta dị ka, nnọchi aha, nrụ aka, njikọ na nsọkwụnye d.g site n’igosipụta ọdịdị na ọrụ ha. E nyere nkọwa na atụ dị iche iche iji mee ka ihe ọmụmụ doo ụmụ akwụkwọ anya. E ji nnọchi aha anọchi anya mkpọ aha na nkebi okwu ma ọ bụ n’ahịrị okwu. Nrụ aka na-egosi mkpọ aha a na-ekwu maka ya. Njikọ na-ejikọ mmewere ahịrị okwu dị iche iche dị ka mkpụrụ okwu, nkebi okwu, ahịrị okwu na nkebi ahịrị na ibe ha. Nsọkwụnye na-ekwuwanye maka mkpọ aha ma ọ bụ ngwaa ọ na-esote.

**6.0 Ihe omume**

Dee ahịrị okwu ise gbasara njeji asụsụ nke nta ndị a n’otu n’otu

i. Nnọchi aha

ii. Nrụ aka

iii. Njikọ

iv. Nsọkwụnye

**Nrụmaka/ngụmi**

Emenanjọ, E. N. (2015). *Contemporary Igbo grammar: Constituents, features and processes.* Port Harcourt: M & J Grand Orbit and Linguistics Association of Nigeria.

Ikekeọnwụ, C. I., Ezikeojiakụ, P. A., Ụbanị A. & Ugọjị, J (1999). *Fọnọloji na grama Igbo.* Ibadan: University Press.

Mbah, B. M. (1999). *Studies in syntax. Igbo phrase structure*. Nsukka: Prize Publishers

Mbah, B. M. (2011). *GB syntax: A minimalist theory and application to Igbo*. Cross River: Association of Nigerian Authors.

Mbah, B. M, & Mbah, E. E. (2014). *Atụmatụ amụmamụ asụsụ*. University of Nigeria Press Ltd.

Nwẹya, G. O. (2013). Mmetụta dị n’etiti usoro okwu na echiche. *Ekwe: Jọnalụ otu jikọrọ ndị ji edemede akwalite asụsụ na omenala Igbo, alaka ya nke Naịjirịa.* Awka: Igbo Scholars Forum. Vọl. 1. Nọ. 1, 112-131.

Nwẹya, G. O. (2014). Igbo Grammar I. LIN. 221 Ndetụ ihe nkụzi.
Nwẹya, G. O. (2018). The Igbo clause structure and the cartography of the complementiser phrase domain, Nchọcha PhD, Nnamdị Azịkiwe University, Awka.
Nwẹya, G. O. (2021). Articulated structure of the Igbo tense phrase domain. *Journal of West African language.* Vọl. 48, Nọ. 2. 1-20.
Ouhalla, J. (1991). *Functional categories and parametric variation*. London: Routledge.
Radford, A. (2009). *Analysing English sentences: A minimalist approach.* New York: Cambridge University Press.
Uchechukwu, C. & Mbah, B.M. (2010). *The preposition in Igbo.* Onitsha: Edumail

## MODUL 2: ISI OKWU ỤFỌDỤ N’USORO OKWU

Yunit 1 Nkebi okwu
Yunit 2 Ọrụ nke ụtọ asụsụ
Yunit 3 Eserese nkọwa

### Yunit 1 Nkebi okwu

**NDỊNA**

1.0 Mkpọlite
2.0 Ebumnobi
3.0 Ndịna kpọm kwẹm
3.1 Nkebi okwu
3.2 Ụdịdị nkebi okwu
4.0 Mmechi
5.0 Nchịkọta
6.0 Ihe omume
7.0 Nrụmaka/ngụmi

### 1.0 Mkpọlite

Yunit a lebara anya n’ọkpụrụkpụ okwu ụfọdụ dị mkpa na ntụle usoro okwu. Otu n’ime ha bụ nkebi okwu. Nkebi okwu bara nnukwu uru na ntụle asụsụ n’ihi na ọ bụ ogo na-esote mkpụrụ okwu na mwube ahịrị okwu. Etu mkpụrụ okwu si esote onwe ha na nkebi okwu nwere ike ịdị iche site n’otu asụsụ gaa n’asụsụ ọzọ. Akparamagwa nkebi okwu na-esite n’etu mkpụrụ okwu ndị mebere nkebi okwu si apụta ihe na ya. A ga-elebakwa anya n’ọdịdị ndokọ nkebi okwu.

### 2.0 Mbunuche

Na ngwụcha nkụzi a, e bu n’obi na nwata akwụkwọ ga-enwe ike:

a. kọwaa nkebi okwu na ụdịdị ya e nwere n’Igbo.
b. ziputa ndịmiche dị n’etiti nkebi okwu na nkeji okwu.
c. depụta akparamagwa atọ e ji mara nkebi okwu ọ bụla.
d. nye ihe atụ na nkebi okwu ọ bụla.

3.0 **Ndịna kpọm kwẹm**

3.1 **Nkebi okwu**

Nkebi okwu bụ otu mkpụrụ okwu ma ọ bụ karịa nke nọ n'usoro, nwee echiche ma nwe ike ịnọ dị ka mmewere ahịrị okwu. Ọ nọ n'agbata mkpụrụ okwu na nkebi ahịrị. O nwere ike bụrụ otu mkpụrụ okwu ma ọ bụ karịa, nke nwere ike ịnọ dị ka isi ahịrị ma ọ bụ mmeju. N'Igbo, okwu nwere ike ịnọ dị ka mmewere ahịrị okwu anaghị enwekarị echiche zuru oke n'onwe ha. Ọmụma atụ

**Njirimara nkebi okwu**

a. O nwere ike ịbụ otu mkpụrụ okwu ma ọ bụ mkpụrụ okwu ole na ole.

b. O nweghi ike ịnọrọ onwe ya dị ka ahịrị okwu.

ch. Ọ ga-enweriri isi nkebi okwu. N'ihi nke a, ọ ga-adabarịrị n'otu nkeji asụsụ.

N'asụsụ ọ bụla, mkpụrụ okwu ọ bụla nwere nkeji asụsụ ọ dabara na ya. Nke a na-enye aka ịmata aha nkebi okwu, ọkachasị oge ọ bụ naanị otu mkpụrụ okwu mejupụtara ya. Na modul 1, a kọwara na e nwere ike ịmata nkeji asụsụ mkpụrụ okwu Igbo dabara na ya site n'ọnọdụ ọ na-arụ n'ahịrị okwu. Ndị nwe asụsụ na-egosipụtakwa na ha mara ọrụ mkpụrụ okwu ndị a site n'iwebata ha n'okwu etu o kwesiri. Oge nwata na-amụ asụsụ, ọ na-amụ mkpụrụ okwu na ọrụ ha na-arụ n'asụsụ. Nkebi okwu na-enwe isi nkebi okwu. Ọ bụ mkpụrụ okwu bụ isi nkebi okwu na-ekwu nkeji asụsụ nkebi okwu dabara na ya ma ọ bụ ụdị nkebi okwu a na-ekwu maka ya. Lee anya n'atụ na-esonu.

(1) a. nwoke

b. nwoke ọcha

ch. nwoke ọcha ahụ

d. nwoke ogologo ọcha ahụ

N'atụ ndị a, nwoke bụ isi nkebi okwu. E nwere ike ịmata okwu bụ isi nkebi okwu site n'iji ya dochie anya nkebi okwu ahụ n'ahịrị okwu. Ya bụ, e nwere ike iji nwoke dochie anya ya bụ nkebi okwu etu a.

(2) Nwoke ogologo ọcha ahụ bịara ebe a. ⟶ Nwoke (ahụ) bịara ebe a.

N’ebe a, nwoke bụ isi nkebi okwu. Okwu ndị ọzọ dị ka *ogologo*, *ọcha* na *ahụ* bụcha okwu na-akọwa isi nkebi okwu a na-ekwu maka ya. Na nkebi okwu nke mkpọ aha, isi nkebi okwu na-ebu ụzọ n’usoro okwu Igbo mana ọ na-ekpe azụ na Bekee, d.k.

(3) a the tall white **man**

b. **nwoke** ogologo ọcha ahụ

N’atụ a, isi nkebi okwu kpe azụ na Bekee ma bute ụzọ n’Igbo. Ọ bụ ka usoro nhazi okwu n’asụsụ na-egosi ọnọdụ isi nkebi okwu. Na nkebi okwu mbu ụzọ, isi nkebi okwu na-ebute ụzọ n’ụfọdụ asụsụ dị ka asụsụ Igbo.

**Nnwale onwe**

- Kọwaa nkebi okwu ma depụta njirimara nkebi okwu atọ e nwere.

### 3.2 Ụdịdị nkebi okwu

E nwere ụdịdị nkebi okwu n’asụsụ dị ka nchọpụta ndị okaasusu gosi aka. Ha gụnyere:

i) Nkebi okwu mkpọ aha

ii) Nkebi okwu ngwaa

iii) Nkebi okwu mbu ụzọ

iv) Nkebi okwu nkọwa

g) Nkebi okwu nkwuwa

#### 3.2.1. Nkebi okwu mkpọ aha

Nke a bụ otu mkpụrụ okwu ma ọ bụ karịa, nke nwere ike ịnọ dị ka nkebi okwu, nke aha bụ isi ya. Ọ bụrụ otu mkpụrụ okwu, okwu ahụ ga-abụrịrị mkpọ aha. Na nkebi okwu mkpọ aha, ọ bụ mkpọ aha na-abụ isi nkebi okwu, d.k.

4. a. *Mmadụ* bịara *ebe a*.

b. *Nwoke ọcha* bịara *ebe a*.

ch. *Nwoke ọcha ahụ* bịara *ebe a*.

N’ahịrị okwu ndị a, okwu ndị e degọrọ edegọ bụ nkebi okwu mkpọ aha. *Mmadụ* na *nwoke* bụ isi nkebi okwu ebe ndị ọzọ bụ nkọwa. Ha ga-anọrịrị na nkebi okwu tupu a kpọọ nkebi okwu nke mkpọ aha. Nkebi okwu mkpọ aha ga-enweriri mkpọ aha. Ya bụ na o nwere ike ịdị n’usoro a.

a) Otu okwu nwere ike ịbụ nkebi okwu, dị ka

*Okonkwọ* gara *njem.*

b) O nwere ike ịbụ mkpọ aha abụọ, d.k.

*Okoeke na Okoafọ* hụrụ Ogu.

ch) O nwere ike ibu mkpọ aha na nkọwa aha, d.k.

*Agwa ọma* dị *nnukwu mkpa.*

d) O nwere ike ịbụ mkpọ aha na ọnụ ọgụ, d.k.

Ụ̀lọ atọ̀ dara n’oge ha.

e) O nwere ike ịbụ mkpọ aha na nrụ aka, d.k.

Chijioke zuru *oche a n’Aba*

f) O nwekwara ike ịbụ mkpọ aha na mkpokọta, d.k.

Ha kpọrọ mmadụ ole na ole/dum/niile oriri

Ihe atụ ndị ọzọ bụ

(5) a. oroma Ngọzi Okonkwọ

b. nwa anyị

ch. ụlọ akịrịka atọ

d. akwụkwọ Ada niile

e. udu iri Ngozi

f. ewu ojii anyị

g. elekere ọma atọ

### 3.2.2 Nkebi okwu ngwaa

Nke a bụ mkpụrụ okwu ole na ole nọ n’usoro nke otu n’ime ha ga-abụrịrị ngwaa (Mbah, 1999, 2018). Nke a gụnyere isi ngwaa na mmeju ngwaa, ọmụma atụ

(6) a. Ngọzi *hụrụ ụlọ (elu)*

| | | |
|---|---|---|
| b. | Oziọma *gbara ama*. | |
| ch. | Odo *dara n'ule*. | Ngwaa + NMB |
| d. | Ugwu *bi n'ụzọ Ọnịcha*. | N+NMb |
| e. | Obodo a *dị atịtị*. | Ngwaa + NN |
| f. | Efere a *dị ọcha*. | Ngwaa+M |
| g. | Ebo *siri ezigbo nri*. | Ngwaa + N + M |
| h. | O *mere ọfụma*. | Ngwaa + adv |

### 3.2.3 Nkebi okwu mbu ụzọ

Nke a bụ mkpụrụ okwu abụọ ma ọ bụ karịa nke mbu ụzọ bụ isi ya. Mbu ụzọ enweghi ike ịnọ naanị ya dị ka nkebi okwu mbu ụzọ. Ọ ga-enweriri mmeju. Otutu oge, mmeju ya na-abụkarị mkpọ aha, d.k.

| | | | |
|---|---|---|---|
| (7) | a. | Ọ nọ *n'ụlọ*. | NMb + Mbu ụzọ + Mkpọ aha |
| | b. | Ọ nọ *n'ebe ahụ*. | |
| | ch. | Ọ nọ *n'etiti ụzọ*. | |
| | d. | O jere *n'ime ụlọ n'abalị*. | Mbu ụzọ + nke aha +NMb |
| | e. | Ọ gafere *n'etiti ụzọ na mgbede*. | |
| | f. | Ọ batara *n'ụlọ ọfụma*. | Mbu ụzọ + Mkpọ aha + Nkwuwa |
| | g. | Ha kwuru *banyere Elechi*. | Mbu ụzọ + nke mkpọ aha |
| | gb | Ha mara *maka akwụkwo a*. | |
| | gh. | Ha jere site ebe a. | |

### 3.2.6 *Nkebi okwu nkọwa aha*

Nkebi okwu nkọwa bụ mkpụrụ okwu ole na ole nke nkọwa bụ is ya. N'asụsụ Igbo, nkọwa nwere ike ịmalite nkebi okwu. Oge ọ bụla nke a mere, ihe a ga-akpọ nkebi okwu ahụ bụ nkebi okwu nkọwa, d.k.

(8) a. Ogologo mmadụ gafere ebe a.

b. Ajọ nwoke na-alụ ya.

ch. Ezigbo moto gbafere be anyị.

d. Oke mmadụ nwụrụ na be ha.

e. Uche dị obere ọcha.

### 3.2.7 Nkebi okwu nke nkwuwa

Dị ka ibe ya, nkebi okwu nkwuwa bụ otu mkpụrụ okwu ma ọ bụ karịa dị n'usoro nke nkwuwa bụ isi ya. Iwu abụghị na nkebi okwu nkwuwa ga-enwe mmeju dị ka nkebi okwu ndị ọzọ dị ka mkpọ aha, ngwaa na mbu ụzọ. O nwere ike ịbụ opeka mpe otu nkwuwa, ebe mkpụrụ okwu ndị ọzọ na-eso bụ mmeju na nkọwa. Lezie anya n'atụ ndị a;

(9) a. Ọ mụrụ nwa ọfụma.

b. O mere ya nnọ nwayọọ.

ch. Ha zụtara ụlọ ugbu a.

d. Unere ha chara ụnya ahụ.

**Nnwale onwe**

- Were ihe atụ atọ atọ kọwaa ụdịdị nkebi okwu anọ e nwere.

### 4.0 Mmechi

Ihe ọmụmụ a lebara anya na nkebi okwu Igbo na ụdịdị ya. A kọwara na nkebi okwu ọ bụla ga-enweriri isi nkebi okwu, nke ọ bụ ya na-enye nkebi okwu ọ bụla aha ya. E nwekwazịrị mkpụrụ okwu ga, ndị ya na isi nkebi okwu na-emekọrịta na nkebi okwu ọ bụla. Ha niile na-arụkọ ọrụ dị ka mmewere ahịrị okwu.

### 5.0 Nchịkọta

N'ihe ọmụmụ a, a kọwara nkebi okwu, ndị nwere ike inwe otu mkpụrụ okwu ma ọ bụ mkpụrụ okwu ole na ole, ndị nwere ike ịnọ dị ka mmewere ahịrị okwu. Nkebi okwu ọ bụla na-enwe isi nkebi okwu na mkpụrụ okwu ndị na-emeju ma ọ bụ akọwa ya. A na-enwe ọnọdụ, nke mkpụrụ

okwu ọ bụla na-anọ na nkebi okwu. E nwere ike iji naanị isi nkebi okwu dochie anya nkebi okwu n'ahịrị okwu ma ọ bụ na nkebi ahịrị.

## 6.0 Ihe omume

i. Kọwaa mpụtara 'nkebi okwu' n'uju.

ii. Kọwaa otu ụzọ e nwere ike isi chọpụta okwu bụ isi nkebi okwu

iii. Were ihe atụ atọ atọ kọwaa ụdị nkebi okwu anọ e nwere.

## 7.0 Nrụmaka/ngụmi


Emenanjọ, E. N. (2015). *Contemporary Igbo grammar: Constituents, features and processes*. Port Harcourt: M & J Grand Orbit and Linguistics Association of Nigeria.

Ikekeọnwụ, C. I., Ezikeojiakụ, P. A., Ụbanị. A. & Ugọjị, J (1999). *Fọnọlọji na grama Igbo.* Ibadan: University Press.

Mbah, B. M. (1999). *Studies in syntax. Igbo phrase structure*. Nsukka: Prize Publishers

Mbah, B. M. (2011). *GB syntax: A minimalist theory and application to Igbo*. Cross River: Association of Nigerian Authors.

Mbah, B. M. (2018). *Generalised Igbo syntax.* Awka: Amaka Dreams Ltd.

Mbah B. M, Mbah E. E (2014) *Atụmatụ amụmamụ asụsụ*. University of Nigeria Press Ltd, Enugu.

Nwẹya, G. O. (2014). Igbo grammar I. LIN 221. Ndetu ihe nkụzi.

Nwẹya, G. O. (2013). Mmetụta dị n'etiti usoro okwu na echiche. *Ekwe: Jọnalụ otu jikọrọ ndị ji edemede nkwalite asụsụ na omenaala Igbo, alaka ya nke Naịjirịa.* Awka: Igbo Scholars Forum. Vọl. 1. Nọ.1, 112-131.

Nwẹya, G. O. (2018). The Igbo clause structure and the cartography of the complementiser phrase domain. Ph.D thesis, Nnamdị Azịkiwe University, Awka.

Nwẹya, G. O. (2021). Articulated structure of the Igbo tense phrase domain. *Journal of West African languages.* Vọl 48, Nọ 2. 1-20.

Ouhalla, J. (1991). *Functional categories and parametric variation*. London: Routledge.

Radford, A. (2009). *Analysing English sentences: A minimalist approach.* New York: Cambridge University Press.

Uchechukwu C. & Mbah, B.M. *The preposition in Igbo.* Onitsha: Edumail

**Yunit 2 Ọrụ ụtọ asụsụ**

**Ndịna**

1.0 Mkpọlite

2.0 Mbunuche

3.0 Ndịna kpọm kwẹm

3.1 Isi ahịrị

3.2 nnara

4.0 Mmechi

5.0 Nchịkọta

6.0 Ihe omume

7.0 Nrụmaka/ngụmi

## 1.0 Mkpọlite

Dị ka e lebacharala anya na mmewere nkebi okwu dị oke mkpa na mwube ahịrị okwu, ọ dịkwa mkpa ileba anya n'ọrụ ha nwere ike ịrụ n'ahịrị okwu. N'usoro ụtọ asụsụ ọdịnala, a na-elebakarị anya n'ọrụ mkpụrụ okwu n'ekwurekwu ụfọdụ n'ahịrị okwu. Nke a gụnyere ọrụ dị ka isi ahịrị na nnara. Ha bụ nkeji ahịrị pụtara ihe n'ahịrị okwu. N'ebe a, a ga-eleba ha anya n'otu n'out.

## 2.0 Mbunuche

Na ngwụcha nkụzi a, e bu n'obi na nwata akwụkwọ ga-enwe ike:

a. Kọwaa ọrụ isi ahịrị na-arụ n'ahịrị okwu.
b. Gosipụta mkpụrụ okwu nwere ike ọrụ dị ka isi ahịrị.
c. Kọwaa nnara na-arụ n'ahịrị okwu
d. Gosipụta mkpụrụ okwu nwere ike ịrụ ọrụ dị ka isi ahịrị, nnara, na mmeju

## 3.0 Ndịna kpọm kwẹm

### 3.1 Isi ahịrị

A ga-achọpụta na isi ahịrị na-egosi isi okwu a na-ekwu maka ya n'ahịrị okwu, ebe ọdụ ahịrị na-ezipụta emereme dị n'ahịrị okwu. E nwere ike iji ihe atụ ndị a zipụta nke a.

(1) a. *Eze* sere foto

b. *Eze ahụ* sere foto

ch. *Eze ọcha ahụ* sere foto

d. *Eze ogologo ọcha ahụ* sere foto

e. *Eze mmakụ ogologo ọcha ahụ* sere foto

N'atụ ndị a, okwu e edegọrọ edegọ na-arụ ọrụ dị ka *isi ahịrị* site igosipụta onye mere emereme ise foto n'ahịrị okwu. Atụ (a) na-egosi na otu mkpọ aha (Eze) nwere ike ịbụ isi ahịrị ebe atụ (b-e) na-egosi na o nwere ike ịbụ nkebi okwu mkpọ aha dị ka *Eze ahụ*, *Eze ọcha ahụ*, *Eze ogologo ọcha ahụ* ma ọ bụ *Eze makụ ogologo ọcha ahụ.*

**Nnwale onwe**

- Jiri atụ dabara nke ọma kọwaa isi ahịrị.
- Depụta okwu ole na ole nwere ike ịrụ ọrụ ka isi ahịrị.

## 3.2 Ọdụ ahịrị

N'aka nke ọzọ, ọdụ ahịrị bụ ewumewu, nke ngwaa bụ isi ya, nke na-ezipụta ihe a na-ekwu gbasara isi okwu ahụ. Ọ bụ ya na-akọwapụta emereme e mere n'ahịrị okwu. Lezie anya n'atụ ndị a.

(2) a. Eze *sere foto.*

b. Eze *sere foto agbamakwụkwọ.*

ch. Eze *sere foto agbamakwụkwọ n'ụlọ ụka.*


d. Eze *sere foto agbamakwụkwọ n'ụlọ ụka enyi ya nwoke rụrụ.*

N'atụ ndị a, okwu ndị e degọrọ edegọ na-ezipụta ọdụ ahịrị. Nke a gụnyere ngwaa *sere* na mmeju/ọdụ ahịrị ya *foto*. Mmeju/ọdụ ahịrị nwekwara ike ịbụ nkebi okwu. N'atụ (2b), (2ch), na

(2d), mmeju ngwaa bụ *foto agbamakwụkwọ, foto agbamakwụkwọ n'ụlọ ụka* na *foto agbamakwụkwọ n'ụlọ ụka enyi ya nwoke rụrụ* n'otu n'otu.

Ihe jịkọrọ ha abụọ ọnụ bụ na ha na-ezipụta ndị nsoreme dị n'ahịrị okwu. Isi ahịrị na ọdụ ahịrị na-ezipụta mmekọrita n'ogo usoro okwu, nke a na-esi na ya enweta agba ala eserese nkọwa nkebi okwu. Site na nkọwa a, a ga-ahụ na mmewere ahịrị okwu ọ bụla na-egosi na ahịrị okwu ọ bụla na-ekewa ụzọ abụọ pụtara ihe.


(3)




Ahịrị okwu ịgba ụzọ abụghị ihe ntụmadị. O doro anya na a bịa na nkọwa ahịrị okwu ọ bụla, nkeji ndị a na-egosipụta mmekọrịta dị n'etiti mmewere ahịrị okwu abụọ dị ka e gosiri na (3)

Site n'atụ ndị a, a ga-ahụ na ahịrị okwu ọ bụla na-atụkwasị uche n'otu isi okwu nke isi ahịrị na-ezipụta. Nkeji ahịrị nke ọzọ na-ekwu gbasara isi okwu ahụ. Site n'atụ ndị a, a ga-achọpụta na isi ahịrị na ọdụ ahịrị bụgbado nkebi okwu mkpọ aha. Ọ bụ ọnọdụ ha n'ahịrị okwu mere ka ha dị iche. Akara nkọwa nkebi okwu a na-esote gosipụtara nke a.

(4)




Site n'atụ a, a ga-ahụ na nkebi okwu mkpọ aha dị n'isi ahịrị dịkwa n'ọdụ ahịrị. Mkpọ aha dị n'ọ̀dụ ahịrị nwere ike ịrụ ọrụ dị ka ọdụ ahịrị. Nke a gụnyere mmeju, nnara ma ọ bụ nnapụta.

**Nnwale onwe**

- Kọwaa ọdụ ahịrị.
- Jiri eserese nkọwa nkebi okwu zipụta etu ya na isi ahịrị si emekọrịta na mwube ahịrị okwu.

## 4.0 Mmechi

N'ihe ọmụmụ a, e lebara anya n'isi okwu ụfọdụ dị mkpa n'usoro okwu Igbo, d.k. isi ahịrị na ọdụ ahịrị. Mkpụrụ okwu dị n'ahịrị okwu, dị ka mkpọ aha na ngwaa, nwere ọrụ pụrụ iche ha na-arụ n'ahịrị okwu. N'ọdụ ahịrị, ọrụ dị ka mmeju, nnara, orite/nnapụta na-ezipụta mmekọrịta dị n'etiti ngwaa na mkpọ aha nakwa n'etiti mbu ụzọ na mkpọ aha na-eso ya na nkebi okwu ọ bụla. Ọ dị mkpa ịghọta isi okwu ndị a nke ọma ka o nyere aka na ntụle asụsụ n'ogo nkebi okwu, nkebi ahịrị na ahịrị okwu.

## 5.0 Nchịkọta

Na nkeji nkụzi a, e labara anya na katigori ọrụ, dị ka o si metụta ọrụ mkpụrụ okwu nwere ike ịrụ n'ahịrị okwu. Nke a gụnyere isi ahịrị na ọdụ ahịrị. Isi ahịrị na-egosi onye/ihe mere emereme dị n'ahịrị okwu ebe ọdụ ahịrị na-ezipụta ya bụ emereme kpọm kwẹm. Nke a gụnyere onye/ihe emereme ahụ metụtara. Ngwaa na mkpọ aha na-enwe mmekọrịta pụrụ iche n'ahịrị okwu. Mmekọrịta a na-apụta n'ọrụ dị iche iche mkpọ aha nwere ike ịrụ na ahịrị okwu dị ka mmeju, nnara na nnapụta.

## 6.0 Ihe omume

Jiri atụ dabara nke ọma kọwaa isi okwu ndị a n'otu n'otu:

- Eserese nkọwa nkebi okwu
- Isi ahịrị
- Ọdụ ahịrị

## 7.0 Nrụmaka/ngụmi

Nwẹya, G. O. (2014). Igbo grammar I. LI 221 Ndetu ihe nkụzi, Mahadum Ibadan, Naịjiriạ.

Nwẹya, G. O. (2013). Mmetụta dị n’etiti usoro okwu na echiche. *Ekwe: Jọnalụ otu jikọrọ ndị ji edemede akwalite asụsụ na omenala Igbo, alaka ya nke Naịjirịa.* Awka: Igbo Scholars Forum. Vọl. 1. Nọ. 1, 112-131.
Nwẹya, G. O. (2018). The Igbo clause structure and the cartography of the complementiser phrase domain, Nchọcha PhD, Nnamdị Azịkiwe University, Awka.
Nwẹya, G. O. (2021) Articulated structure of the Igbo tense phrase domain. *Journal of West African languages.* Vọl. 48, Nọ. 2. 1-20.
Ouhalla, J. (1991). *Functional categories and parametric variation*. London: Routledge.
Radford, A. (2009). *Analysing English sentences: A minimalist approach.* New York: Cambridge University Press.
Taiwo, O. (2010). Transformational grammar I. LIN 321. Ndetu ihe nkụzi, Mahadum Ibadan, Naịjirịa.
Taiwo, O. (2016). Transformational grammar II. LIN 421 Ndetu ihe nkụzi, University of Ibadan.

## Yunit 3 Eserese nkọwa nkebi okwu

**Ndịna**

1.0 Mkpọlite

2.0 Mbunuche

3.0 Ndịna kpọm kwẹm

3.1 Eserese nkebi okwu

4.0 Mmechi

5.0 Nchịkọta

6.0 Ihe omume

7.0 Nrụmaka/ngụmi

### 1.0 Mkpọlite

Na yunit nke abụọ nke modul a, e lebara anya n'ọrụ mkpụrụ okwu na-arụ, mgbe a ọ dị n'ahịrị okwu dị ka isi ahịrị, ọdụ ahịrị na mmeju. Ọrụ ndị a na-egosi na mkpụrụ okwu e webatara n'ahịrị okwu ọkachasị mkpọ aha na ngwaa ga-enweriri ihe ọ na-arụ. N'ebe a, a ga-eji eserese nkọwa nkebi okwu gosiwanye mmekọrịta dị n'etiti mmewere ahịrị okwu ndị a.

## 2.0 Mbunuche

Na ngwụcha nkụzi a, e bu n'obi na nwata akwụkwọ ga-enwe ike:

a. kọwaa eserese nkọwa nkebi okwu
b. gosipụta mkpụrụ okwu nwere ike ọrụ dị ka isi ahịrị
c. kọwaa ọdụ ahịrị na-arụ n'ahịrị okwu
d. gosipụta mkpụrụ okwu nwere ike ọrụ dị ka isi ahịrị, ọdụ ahịrị/mmeju, nnara/nnapụta

## 3.0 Ndịna kpọm kwẹm

### 3.1 Eserese nkọwa nkebi okwu

N'atụtụ mgbanwe, a naghị ahụta ahịrị okwu ka mkpụrụ okwu ma ọ bụ nkebi okwu a kwuwara n'ahịrị; kama, ahịrị okwu ọ bụla na-ahazi mmewere ya n'ogo dị iche iche. Iji zipụta ogo ndị a, a na-eji eserese nkọwa nkebi okwu ma ọ bụ eserese osisi egosipụta mmekọrịta dị n'etiti mmewere ahịrị okwu ọ bụla n'ogo dị iche iche.

Ya bụ na eserese nkọwa nkebi okwu na-akọwa ogo dị iche iche e nwere na nhazị usoro okwu. Nkeji niile mewere ahịrị okwu ọ bụla na-apụta ihe n'eserese nkọwa nkebi okwu. A na-eji eserese nkọwa akọwa àbà ọ bụla, nke ya na nkeji mmewere na-anọchite anya ya.

Esere nkọwa nkebi okwu bụ eserese nwere àbá dị iche iche nke alaka dị iche iche jikọtara. Ọ na-adị ka ukwu osisi na-enweghi mkpọrọgwụ, nke a kpọrọ isi n'ala. Iji ghọta ihe banyere eserese nkọwa nkebi okwu, a ga-akọwa ọkpụrụkpụ okwu ụfọdụ n'ebe a.

i. **Aba**: Nke a bụ akụkụ akara nkọwa, nke na-ebu akara na-akọwa isi nkeji asụsụ, nke a na-ekwu maka ya, dị na ya. Ọmụna atụ NM, NN, NNK, NK, NKW.

ii. **Akara aba**: Nke a bụ aha nkeji asụsụ dị n’aba ọ bụla.

iii. **Ahịrị njikọ**: Nke a bụ ahịrị na-ejikọ otu aba na ibe ya.


iv. **Aba mgbasa**: Nke a bụ aba nwere alaka abụọ. Ya bụ, aba, nke alaka ya gbasara ụzọ abụọ.

v. **Aba ekeresi**: Nke a bụ aba, nke nwere naanị otu alaka. Ọ naghị agba abụọ.

vi. **Nnọgide**: Mkpụrụ okwu ma ọ bụ nkebi okwu na-anọgide mkpụrụ okwu ma ọ bụ nkebi okwu ọzọ ma ọ bụrụ na ọ nọ ya n’elu n’eserese. Ka e were iwu ndokọ nkebi okwu a na-esote maa atụ.

A → B CH

Ọ bụrụ na ‘A’ bụ NM, ebe ‘B’ na ‘CH’ mewere ya bụ mkpọ aha (M) na nrụ aka (Nr) n’otu n’otu, e nwere ike izipụta ya n’eserese nkọwa n’ụzọ dị etu a.





N’eserese nkọwa nkebi okwu a, a ga-ahụ na NM (A) nọgidere M(B) na Nr (CH) n’otu n’otu. Ọ bụrụ na o nwere ihe ndị ọzọ mewere B na CH, a mara na ‘A’ nọgidere ha niile. Aba abụọ, nke otu aba nọgidere bụ ụmụ nne. N’atụ a, B na CH bụ ụmụ nne ebe ‘A’ bụ nne ha. Ọ bụrụ na e nwere aba ndị ọzọ na-esote ha dị ka n’usoro B CH D…Z, a ga-asị na ‘A’ na-anọgide ha n’uju. E nwere ike ịkpọ nke a nnọgide ndịnuju. E ji nke a ezipụta ọkwa nkebi okwu ọ bụla nwere n’eserese nkọwa nkebi okwu.

vii. **Nnọnekpe**

Nke a bụ ọkpụrụkpụ okwu na-akọwa na aba ọ bụla nọ n’aka ekpe aba ọzọ bu ya ụzọ n’eserese nkọwa nkebi okwu. A na-akpọ ụdị nnọnekpe a nnọnekpe nsochi. Mana ọ bụrụ na aba ọzọ nọ n’agbata ha abụọ, ọ bụrụ nnọnekpe nkịtị. E ji nke a akọwa etu mkpụrụ okwu ma ọ bụ nkebi okwu si esote onwe ha n’ahịrị okwu. Hụ eserese a na-esonu.



()




N’ebe a, B nọ CH n’aka ekpe. Nke a pụtara na o bu ya ụzọ n’eserese nkebi okwu a. N’otu aka ahụ, CH nọ D n’aka ekpe, ebe B na CH nọ D n’aka ekpe ma buru ya ụzọ n’eserese nkebi okwu. E lee anya, a ga-ahụ na B butere CH ụzọ n’eserese nkebi okwu ma o nweghi ihe ọ bụla nọ n’agbata ha abụọ. N’ihi nke a, a ga-asị na ụdị nnọnekpe a bụ nnọnekpe nsochi. N’otu aka ahụ, CH butekwazịrị D ụzọ n’eserese nkebi okwu ma o nweghi ihe nọ n’agbata ha abụọ. Nke a dabakwara na nnọnekpe nsochi. Mana ụdị nnọnekpe e nwere n’etiti B na D dị iche n’ihi na CH nọ n’agbata ha abụọ. Ihe a na-akpọ ụdị nnọnekpe a bụ nnọnekpe nkịtị.

Site na nkọwa e nyerela, a ga-aghọta na aba abụọ ma ọ bụ karịa nọ n’eserese nkebi okwu na-enwe ụdị mmekọrịta abụọ; ha bụ mmekọrịta nnọgide na mmekọrịta nnọnekpe.

**viii. Ọnọdụ aba**

A na-akọwa aba site n’ọnọdụ o nwere ike ịnọ n’eserese nkebi okwu. Ọ bụrụ na otu aba nọgidere aba ọzọ, nke na aba ahụ ọ nọgidere mụtakwara aba ọzọ, a na-akpọ ya *aba mgbatị*. Aba ndị dabanyere n’ụdị a gụnyere aba ọ bụla nọgidere aba mgbatị ọzọ. N’aka nke ọzọ, ọ bụrụ na aba eserese nkebi okwu ebughi akara ọ bụla ma e wezụga mkpụrụ okwu, a na-akpọ ya aba *njedebe.* Usoro mkpụrụ okwu a ga-enweta na njedebe eserese nkebi okwu ka a na-akpọ ahịrị njedebe. Eserese a na-esonu ziputere nke a nke ọma



N’eserese a, ⟶ na-egosi na A bụ aba mgbatị n’ihi aba ọ nogidere mụtara aba ọzọ. Ebe M na N bụ aba njedebe n’ihi na ha amụtaghị aba ọzọ. N’ikpeazụ, Okee, -re, je na ahịa bụ ahịrị njedebe n’ihi na ọ bụ ha dị na njedebe aba niile e nwere eserese nkọwa nkebi okwu ahụ.

Iji mee ka ncheta dị mfe, akara ndị a pụtara:

| | | |
|---|---|---|
| NM | → | Nkebi mkpọ aha |
| NO | → | Ngosi oge |
| NN | → | Nkebi ngwaa |
| M | → | Mkpọ aha |
| V | → | Ngwaa |
| NK | → | Nkọwa aha |
| Nr | → | Nrụ aka |
| NNK | → | Nkebi nkọwa |
| NNKN | → | Nkebi nkwuwa |
| A | → | Ahịrị okwu |
| NKO | → | Nkebi ọdụ ahịrị |

**Nnwale onwe**

*Ada jere ahịa Ọnịcha.* Lezie anya n’ahịrị okwu a ma zaa ajụjụ na-esonu.

- Tinye ahịrị okwu a n’eserese nkọwa nkebi okwu
- Gbado ụkwụ n’ahịrị okwu a kọwaa ọkpụrụkpụ okwu ndị a

  -Aba mgbatị

  -Nnọnekpe

  -Nnọgide

-Aba njedebe

## 4.0 Mmechi

N’ihe ọmụmụ a, e lebara anya n’isi okwu ụfọdụ dị mkpa na ntụle usorokwu Igbo site n’Igbado ụkwụ n’atụtụ mgbanwe. Onye ọ bụla nwere mmasị n’atụtụ mgbanwe kwesiri ịghọta isi okwu ndị a nke ọma ka o nyere aka na ntụle asụsụ n’ogo nkebi okwu, nkebiahịrị na ahịrị okwu maka na ihe ọmụmụ a zipụtara ụdị mmekọrịta dị iche iche nwere ike ipụta ihe n’etiti mmewere ahịrị okwu.

## 5.0 Nchịkọta

Na nchịkọta, ihe ọmụmụ a na-akọwa na mkpụrụ okwu mebere ahịrị okwu anaghị anọ n’ọgbara nkịtị; kama, ha na-anọ n’ogo dị iche iche n’ahịrị okwu. Ọ bụ eserese nkọwa nkebi okwu ka e ji egosipụta ya bụ ogo mmekọrịta, nke na-apụtakarị ihe site na nnọgide na nnọnekpe. A kọwakwara alaka dị iche iche, ndị e nwere ike izute na nkọwa eserese nkọwa nkebi okwu dị ka aba mgbatị, aba njedebe na ahịrị njedebe.

## 6.0 Ihe omume

Jiri atụ dabara nke ọma kọwaa isi okwu ndị a n’otu n’otu

- Eserese nkọwa nkebi okwu
- Isi ahịrị
- Nnọgide
- Nnọnekpe nkịtị
- Aba mgbatị
- Aba

## 7.0 Nrụmaka/ngụmi


Agbẹdọ, C. U. (2000). *General linguistics: An introductory reader*. Nsukka: ACE Resources.

Anagbọgụ, P. N., Mbah, B. M. & Eme, C. A. (2010). *Introduction to linguistics* (mbgh nke 2) Awka: Amaka.

Ikekeọnwụ C. I., Ezikeojiakị, P. A., Ụbanị, A. and Ugọjị, J. (1999). *Fọnọloji na grama Igbo.* Ibadan: University Press.

Mbah, B. M. (1999). *Studies in syntax. Igbo phrase structure*. Nsukka: Prize Publishers.

Mbah, B. M. (2011). *GB syntax: A minimalist theory and application to Igbo*. Cross River: Association of Nigerian Authors.

Mbah, B. M. & Mbah, E. E (2014) *Atụmatụ amụmamụ asụsụ*. University of Nigeria Press Ltd.

Nwẹya, G. O. (2014). Igbo grammar I. LII 221. Ndetu ihe nkụzi, mahadum Ibadan, Naịjirịa.

Nwẹya, G. O. (2013). Mmetụta dị n'etiti usoro okwu na echiche. *Ekwe: Jọnalụ otu jikọrọ ndị ji edemede akwalite asụsụ na omenala Igbo, Alaka ya nke Naịjirịa.* Awka: Igbo Scholars Forum. Vọl.. 1. No.1, 112-131.

Nwẹya, G. O. (2018). The Igbo clause structure and the cartography of the complementiser phrase domain. Nchọcha PhD, Nnamdị Azịkiwe University, Awka.

Nwẹya, G. O. (2021) Articulated structure of the Igbo tense phrase domain. *Journal of West African languages.* Vọl. 48, Nọ. 2. 1-20.

Ouhalla, J. (1991). *Functional categories and parametric variation*. London: Routledge.

Radford, A. (2009). *Analysing English sentences: A minimalist approach.* New York: Cambridge University Press.

Taiwo, O. (2010). Transformational grammar I. LIN 321 Ndetu ihe nkụzi, Mahadum Ibadan, Naịjirịa.

Taiwo, O. (2016). Transformational grammar II. LIN 421 Ndetu ihe nkụzi, Mahadum Ibadan,

Naịjirịa

**Yunit 4: Ọkpụrụkpụ okwu ụfọdụ n'ụtọ asụsụ mgbanwe**

**Ndịna**

1.0 Mkpọlite

2.0 Mbunuche

3.0 Ndịna kpọm kwẹm

3.1 Ndabe

3.2 Nkwukwa

4.0 Mmechi

5.0 Nchịkọta

6.0 Ihe omume

7.0 Nrụmaka/ngụmi

## 1.0 Mkpọlite

Na yunit a, a ga-eleba anya ọkpụrụkpụ okwu ụfọdụ na ntụle usoro okwu. Atụtụ usoro okwu ọ bụla na-enwe isi okwu na-apụta ihe oge ọ bụla e tinyere ya n'ọrụ. Ọ bụ isi okwu ndị ahụ ka a ga-eleba anya n'ebe a. Ha gụnyere ndabe, mwubegharị, dg. N'ụtọ asụsụ mgbanwe, e nwere ike isi n'otu agba ala eserese, nke nkọwa nkebi okwu, wube ihe karịrị ọtụ ahịrị okwu. Nke a ga-egosi na o nweghi ahịrị okwu a ga-asị na ọ bụ ya tokarịchara ndị ọzọ n'ogologo. Oge ọ bụla e tinyere iwu mgbanwe n'ọrụ ugboro ugboro, ọ na-eme ke e nwee ogologo ahịrị okwu. N'ihi ya, a ga-eleba anya n'isi okwu ndị a: mmem ndàbé na nkwúkwágide.

## 2.0 Mbunuche

Na ngwụcha nkụzi a, e bu n'obi na nwata akwụkwọ ga-enwe ike:

a. kọwaa ndabe, mwubegharị na iwu mkpụrụ okwu.
b. nye ọmụma atụ nke ọ bụla n'ime ha.

## 3.0 Ndịna kpọm kwẹm

### 3.1 Mmem ndàbé

Nke a bụ ụdị ndokọ ahịrị okwu a na-enwete oge a gbadoro ụkwụ n'ihe karịrị otu eserese nkọwa nkebi okwu wee wube ahịrị okwu abụọ ma ọ bụ karịa, ndị nwere ike ịkwụrụ onwe ha. Ahịrị okwu ọ bụla na-enwe otu nkebi ahịrị nnọrọ onwe na otu nkebi ahịrị ndabe ma ọ bụ karịa. Nkebi ahịrị ndabe ahụ na-adabe na nkebi okwu mkpọ aha ma ọ bụ nkebi okwu ngwaa, ebe o nwekwara ike ịrụ ọrụ ka mmeju ahịrị.

N'atụ a na-esote, *na ọ gbafuru* na *na obi na-egbu mmadụ* dabere n'ahịrị nnọọrọ onwe "Ọ na-ewute m" na 'Ọ bụ arụ' n'otu n'otu.

(1) a. Ọ na-ewute m na ọ gbafuru

b. Ọ bụ arụ na obi na-egbu mmadụ

N'ebe a, mgbanwe na-eji nkebi ahịrị ndabe anọchite anya mmewere ụfọdụ nke ahịrị isi dị ka nkebi okwu mkpọ aha.

N'aka nke ọzọ, nkebi ahịrị ndabe nwekwara ike ịnọ na nkebi okwu ngwaa. N'ọnọdụ a, ka na-arụ ọrụ mmeju nkebi okwu ngwaa, ịma atụ,

(2) a. Ahụrụ m nwoke ahụ *zụtara moto*

b. Udele na-eri ọkụkọ *ụgbọ gburu*.

N'atụ ndị a, *zụtara moto* na *ụgbọ gburu* bụcha ahịrị okwu ndabe. Ha abụọ na-arụ ọrụ dị ka mmeju nkebi okwu mkpọ aha ha na-esote n'agbanyeghi na ha nọ na mpaghara nkebi okwu ngwaa; ha na-akọwa 'nwoke ahụ' na 'ọkụkọ' n'otu n'otu.

**Nnwale onwe**

Kọwaa ma nye ọmụma atụ ndabe usoro mwube ahịrị okwu

## 3.2 Nkwukwagide

Nke a bụ ụdị ahịrị okwu a na-emebe oge ọ bụla a chọrọ ịgbatị ahịrị okwu n'ewebataghị iwu ọhụrụ ọ bụla. Nke a pụtara na e nwere ike itinye otu iwu e ji wube ahịrị okwu n'ọrụ ugboro ugboro. A na-agbaso usoro a ewube ahịrị okwu n'asụsụ dị iche iche. Ọ bụ n'ihi nke a ka e ji asị na ọ nweghi ahịrị okwu tokarichara ndị ọzọ n'ogologo, ọmụma atụ

(3) Ahụrụ m ndị uwe ojii na-emegbu ndị mmadụ, bụ ndị soja na-achọ kemgbe afọ ise site n'ụbọchị ha malitere ịkpa arụ n'obodo, ebe e zigara ha ọrụ ma na-atụ anya na ha ga-enye aka weta udo n'obodo, nke a na-eche na ọ bụ ha ji akụ na ụba ụwa niile, nke ga-enye aka ịzọ ndị ogbenye ma….

Ahịrị okwu na-egosi mwubeghaṛị; ọ dị ka ahịrị okwu chọọ ịbịa na njedebe, e sikwa na ndokọ ya wubete nke ahịrị okwu ọzọ. Ọ bụ naanị maka nchefu na mgbagwoju anya ga-eme ka a ghara ikwe ka ụdị ahịrị okwu a toro ogologo gawa. Atụ ndị ọzọ gụnyere.

(4) a. *Okee na-eri, achịcha, osikapa, garị, akpụ, ji, akamụ, ede, ụna …na ụkwa.

b. *Nwoke ahụ dị ọcha toro ogologo, gbara agba, siri ike, mara mma, nwere akpụ obi, nwere ogo, buru ibụ…

N'atụ ndị a, e nwere ike ime ka ahịrị okwu ndị a towanye ogologo site n'itinyegharị iwu mgbanwe n'ọrụ, nke ga-etinyeso ahịrị okwu ọzọ na nke ahụ. Ihe a na-ejikarị edubata mwubegharị bụ njikọ, mmeju ma ọ bụ isi ahịrị ndabe. Mwubegharị na-akọwa ihe kpatara na e nwere ike isi n'iwu ole na ole mebete ọtụtụ ahịrị okwu site n'ụtọ asụsụ mgbanwe.

**Nnwale onwe**

Dee nke nke nkọwa mwubegharị.

## 4.0 Mmechi

N'ihe ọmụmụ a, e labara anya n'ọkpụrụkpụ okwu ụfọdụ dị ka mwube ahịrị ndabe na mwubegharị dị ka ụzọ dị iche iche e si emebete ahịrị okwu. E ji ha ezipụta na e nwere ike ịgbaso otu iwu wee mebete ọtụtụ ahịrị okwu.

## 5.0 Nchịkọta

Na nchịkọta ihe ọmụmụ a, a kọwara mwube ahịrị ndabe dị ka ahịrị okwu, nke a na-emebete site n'eserese nkebi okwu karịrị otu ma wube ahịrị okwu dị abụọ ma ọ bụ karia, ndị nwere ike ịkwụụrụ onwe ha. Ọ bụkwa naanị site n'ibu ọrụ ndị ọzọ n'isi ka nke gị e sị we zuo oke.

## 6.0 Ihe omume

Jiri atụ dabara adaba kọwaa mwube ahịrị ndabe na mwubegharị.

## 7.0 Nrụmaka/ngụmi


Agbẹdọ, C. U. (2000). *General linguistics: An introductory reader.* Nsukka: ACE Resources.

Anagbọgụ, P. N., Mbah, B. M. & Eme, C. A. (2010). *Introduction to linguistics* (mbgh nke 2) Awka: Amaka.

Ikekeọnwụ C. I., Ezikeojiakụ, P. A., Ụbanị, A. & Ugọjị, J. (1999). *Fọnọlọji na grama Igbo.* Ibadan: University Press.

Mbah, B. M. (1999). *Studies in syntax. Igbo phrase structure*. Nsukka: Prize Publishers.

Mbah, B. M. (2011). *GB syntax: A minimalist theory and application to Igbo*. Cross River: Association of Nigerian Authors.

Mbah B. M, & Mbah E. E. (2014) *Atụmatụ amụmamụ asụsụ*. University of Nigeria Press Ltd.

Nwẹya, G. O. (2014). Igbo grammar I. LII 221. Ndetu ihe nkụzi, Mahadum Ibadan, Naịjirịa.
Nwẹya, G. O. (2013). Mmetụta dị n’etiti usoro okwu na echiche. *Ekwe: Jọnalụ Otu Jikọrọ Ndị ji Edemede Akwalite Asụsụ na Omenala Igbo, Alaka ya nke Naịjirịa.* Awka: Igbo Scholars Forum. Vọl. 1. Nọ.1, 112-131.
Nwẹya, G. O. (2018). The Igbo clause structure and the cartography of the complementiser phrase domain. Nchọcha PhD, Nnamdị Azịkiwe University, Awka.
Nwẹya, G. O. (2021). Articulated structure of the Igbo tense phrase domain. *Journal of West African languages.* Vọl 48, Nọ 2. 1-20.
Ouhalla, J. (1991). *Functional categories and parametric variation*. London: Routledge.
Radford, A. (2009). *Analysing English sentences: A minimalist approach.* New York: Cambridge University Press.
Taiwo, O. (2010). Transformational grammar I. LIN 321 Ndetu ihe nkụzi, Mahadum Ibadan, Naịjirịa.

## MODUL 3: ỤTỌ ASỤSỤ MGBANWE

Yunit 1 Nhazi grama
Yunit 2 ụtọ asụsụ mgbanwe
Yunit 3 Agba ala
Yunit 4 Agba elu

### Yunit 1 Nhazi ụtọ asụsụ

### Ndịna

1.0 Mkpọlite

2.0 Ebumnobi

3.0 Ndịna kpọm kwẹm

3.1 Nhazi grama

3.2 Ụtọ asụsụ mgbanwe

4.0 Mmechi

5.0 Nchịkọta

6.0 Ihe omume onye nkụzi ga-amaakị

7.0 Nrụmaka/ngụmi

## 1.0 Mkpọlite

Na mbido, a kọwara na asụsụ ọ bụla nwere iwu na akparamagwa. Ọ bụ nke a ka a na-agbakwasị ụkwụ oge a na-ewube atụtụ ụtọ asụsụ. N'ihe ọmụmụ a, a ga-eleba anya n'etu e nwere ike isi jiri ụtọ asụsụ mgbanwe kọwaa ụtọ asụsụ Igbo. Iji ghọta ụtọ asụsụ mgbanwe, ọ dị mkpa ịghọta nkwenye e nwere gbasara echiche mmadụ nwere maka ya. Ọ bụ n'ihi ya ka o ji dị mkpa ịghọta etu ụtọ asụsụ sị dị n'echiche mmadụ dị ka ụfọdụ ndị ọka asụsụ si kwenye.

Ụtọ asụsụ mgbanwe so n'atụtụ ntụle usoro okwu a ma ama n'etiti ndị ọka asụsụ malite n'afọ 1957, oge mbụ e wepụtara ya. Nke a bụ n'ihi na e jirila ya tụlee asụsụ dị iche iche n'agbanyeghi otu mperi ma ọ bụ nke ọzọ. Ọ bụ n'ihi nke a ka e jirila deghariạ ya ọtụtụ oge kemgbe ọ malitere. Iji ghọta atụtụ a, ka ọ dị ugbu a, ọ dị mkpa na nwa akwụkwọ ga-amalite ileba ya anya n'arụmụka ya malite na ntọnala ya ọkachasị agba nke mbụ ya e wepụtara n'afọ 1965.

## 2.0 Mbunuche

Na ngwụcha nkụzi a, e bu n'obi na nwata akwụkwọ ga-enwe ike:

a. kọwaa nhazi ụtọ asụsụ.
b. see eserese na-egosi etu ụtọ asụsụ si dị n'echiche mmadụ.
c. kọwaa ndịmiche n'etiti nnwemike na mmepụta.

## 3.0 Ndịna kpọm kwẹm

### 3.1 Nhazi ụtọ asụsụ

Atụtụ ụtọ asụsụ ọ bụla, dị ka ụtọ asụsụ mgbanwe, rụtụrụ aka n'iwu dị iche iche a na-agbado ụkwụ oge ọ bụla a na-eleba na nkebi okwu ma ọ bụ ahịrị okwu n'asụsụ ọ bụla dị ka ndị nwe asụsụ ahụ siri nabata. Atụtụ ụtọ asụsụ mgbanwe bụ nke a mara dị ka ụtọ asụsụ mwube. Ọ na-eji iwu ole na ole mebete ahịrị okwu agụta agụta. Ọ na-eji ọkpụrụkpụ okwu na akara dị iche iche akọwapụta ka asụsụ si dị n'echiche mmadụ. Amụmamụ asụsụ a na-akọwa na e nwere akparamagwa jịkọtara asụsụ niile ọnụ. Ọ bụ ya kpatara ụfọdụ ndị ọka asụsụ na-eleba anya n'ihe echiche mmadụ nwere ike ime dị ka o si metụta asụsụ. Site n'ileba anya n'echiche mmadụ gbasara asụsụ, a chọpụtara na ụtọ asụsụ ọ bụla nwere mmewere ndị a.

(a) *Ọdọnọ*: Nke a bụ ebe mkpụrụ okwu niile e nwere n'otu asụsụ na-adị. Ọ na-akọwa nkeji asụsụ, echiche ma ọ bụ nghọta na usoro mkpọpụta mkpụrụ okwu niile dị n'otu asụsụ.


(b) *Akpọmakpọ/usoro mkpụrụ ụda:* Nke a bụ alaka ụtọ asụsụ na-akọwa mkpụrụ ụda niile e nwere ike ịkpọpụta n'asụsụ ọ bụla na etu e si edokọ mkpụrụ ụda ndị a, iji mebee mkpụrụ okwu.

(c) *Usoro okwu*: Nke a bụ alaka ụtọ asụsụ na-akọwa usoro e si edokọ mkpụrụ okwu iji mebee ahịrị okwu n'asụsụ ọ bụla.

(d) *Echiche/nghọta okwu*: Nke a na-akọwa ka echiche mkpụrụ okwu dị iche iche mebere ahịrị okwu si apụta ihe n'echiche ahịrị okwu ahụ.

E lebaa anya na mmewere ndị a e deturu, a ga-ahụ na ọ bụ n'ihe ndị a ka a ga-agbado ụkwụ tụlee ahịrị okwu ọ bụla e mebere n'asụsụ tụmadị asụsụ Igbo. Oge a na-atụle ahịrị okwu ọ bụla, a na-agba mbọ ka a chọpụta na ọ gbasoro iwu ụtọ asụsụ nke asụsụ a na-elegara anya. N'ihe ọmụmụ a, atụtụ a ga-agbakwasị ụkwụ na ntụle asụsụ Igbo bụ atụtụ mgbanwe, nke malitere n'afọ 1957. Ọ bụ atụtụ nke onye Amerịka a na-akpọ Noam Chomsky tụpụtara n'afọ 1957 n'akwukwọ ya bụ *Syntactic structures* ma megharịa ya n'afọ 1965 n'akwụkwọ ya bụ *Aspects of the theory of syntax*. Atụtụ a na-eleba anya n'ihe mmadụ mara gbasara asụsụ ya nke na-enyere ya aka iji asụsụ ya mee ihe. Atụtụ a na-akọwa na a haziri ụtọ asụsụ ahazi n'echiche mmadụ dị ka e si gosị na eserese a.

***Nhazi ụtọ asụsụ n'echiche mmadụ***




*(Nhazigharị eserese Horrocks 1987: 27 na Taiwo 2010: 11)*

N'ebe a, a ga-ahụ na ihe mewere ụtọ asụsụ bụ usoro okwu, nghọta okwu na akpọmakpọ. Nghọta okwu na akpọmakpọ na-agbado ụkwụ n'usoro okwu wee na-arụ ọrụ. Ọrụ ha bụ ọrụ nkọwa. Ha anaghị ewube ahịrị okwu. Ihe mepụtara usoro okwu bụ iwu na-ewube ahịrị okwu ndị nwe asụsụ nabatara.

Chomsky (1965) kọwara ọkpụrụkpụ okwu abụọ, ndị dị oke mkpa n'amụmamụ asụsụ. Ha bụ *nnwemike* na *mmepụta*. Nnwemike na-egosi echiche ọsụ asụsụ nwere gbasara asụsụ ya, nke na-ezipụta na ọ mara asụsụ ya nke ọma ma bụrụkwa nke na-enyere ya aka ịsụ asụsụ ya n'enweghi mperi ọ bụla. Ọ bụ echiche gbasara, mkpụrụ okwu, akpọmakpọ, usoro okwu na ghọta. Ọ bụ ụdị echiche a ka ndị nchọcha na-elekwasị anya oge a na-atụle asusụ. N'aka nke ọzọ, mmepụta na-egosi etu mmadụ si eji asụsụ ya na-arụ ọrụ kpọm kwẹm. Na nke a, mperi dị iche iche nwere ike ime ka ọsụ asụsụ ghara izipụtacha echiche o nwere gbasara asụsu ya etu kwesiri dị ka ụjọ, nchefu, mmegharị anya,dg.

Echiche mmadụ nwere gbasara asụsụ ya na-enyere ya aka izipụta ma nghọta o zuru oke ka ọ gbara elu; ị mata mgbe ahịrị okwu dabara na mgbe o riri mperi, nakwa imebete okwu ọhụrụ na nke mmadụ anụbeghị mbụ.

## 4.0 Mmechi

N'ihe ọmụmụ a, e labara anya n'etu e si hazie ụtọ asụsụ n'echiche mmadụ.

## 5.0 Nchịkọta

Na nchịkọta, a kọwara na ihe a na-agbado ụkwụ na-akọwa asụsụ bụ usoro okwu ya. Nke a bụ ewumewu, nke ọsụ asụsụ na-ebu n'uche gbasara adịm mma asụsụ ya. E nwere mpaghara ụtọ asụsụ atọ pụtara ihe: ndokọ okwu, mkpọpụta na echiche. Ndokọ okwu na-ewube okwu ebe akpọmakpọ na echiche na-akọwa mpụtara ndokọ okwu.

## 6.0 Ihe omume

Desita ma kọwaa na nke nke ụdịdị mmewere ụtọ asụsụ

## 7.0 Nrụmaka/ngụmi


Agbẹdọ, C. U. (2000). *General linguistics: An introductory reader.* Nsukka: ACE Resources.

Anagbọgụ, P. N., Mbah, B. M. & Eme, C. A. (2010). *Introduction to linguistics.* (mbgh nke 2) Awka: Amaka.

Ikekeọnwụ C. I., Ezikeojiakụ, P. A., Ụbanị, A. & Ugọjị, J (1999). *Fọnọloji na grama Igbo.* Ibadan: University Press.

Mbah, B. M. (1999). *Studies in syntax. Igbo phrase structure*. Nsukka: Prize Publishers

Mbah, B. M. (2011). *GB syntax: A minimalist theory and application to Igbo*. Cross River: Association of Nigerian Authors.

Mbah B. M, Mbah E. E (2014) *Atụmatụ amụmamụ asụsụ*. University of Nigeria, Press Ltd.

Nwẹya, G. O. (2014). Igbo Grammar I. LII 221 Ndetu ihe nkụzi, Mahadum Ibadan, Naịjiriạ.

Nwẹya, G. O. (2013). Mmetụta dị n'etiti usoro okwu na echiche. *Ekwe: Jọnalụ Otu Jikọrọ Ndị ji Edemede Akwalite Asụsụ na Omenala Igbo, Alaka ya nke Naịjiriạ.* Awka: Igbo Scholars Forum. Vọl. 1. Nọ.1, 112-131.

Nwẹya, G. O. (2018). The Igbo clause structure and the cartography of the complementiser phrase domain, Nchọcha PhD, Nnamdị Azịkiwe University, Awka.

Nwẹya, G. O. (2021). Articulated structure of the Igbo tense phrase domain. *Journal of West African Language.* Vọl. 48, Nọ. 2. 1-20.

Ouhalla, J. (1991). *Functional categories and parametric variation*. London: Routledge.

Radford, A. (2009). *Analysing English sentences: A minimalist approach.* New York: Cambridge University Press.

Taiwo, O. (2010). Transformational grammar I. LIN 321 Ndetu ihe nkụzi, Mahadum Ibadan, Naịjirịa.
Taiwo, O. (2016). Transformational grammar II. LIN 421 Ndetu ihe nkụzi, Mahadum Ibadan, Naịjirịa

## Yunit 2 Ụtọ asụsụ mgbanwe

**Ndịna**

1.0 Mkpọlite

2.0 Ebumnobi

3.0 Ndịna kpọm kwẹm

3.1 Ụtọ asụsụ mgbanwe

4.0 Mmechi

5.0 Nchịkọta

6.0 Ihe omume onye nkụzi ga-amaakị

7.0 Nrụmaka/ngụmi

### 1.0 Mkpọlite

Ụtọ asụsụ mgbanwe so n'atụtụ ntụle usoro okwu a ma ama n'etiti ndị ọka asụsụ malite n'afọ 1957, oge mbụ e wepụtara ya. Nke a bụ n'ihi na e jirila ya tụlee asụsụ dị iche iche n'agbanyeghi otu mperi ma ọ bụ nke ọzọ. Ọ bụ n'ihi nke a ka e jirila degharịa ya ọtụtụ oge kemgbe ọ malitere. Iji ghọta atụtụ ka ọ dị ugbu a, ọ dị mkpa na nwa akwụkwọ ga-amalite ileba ya anya na nkwenye malite na ntọnala ya ọkachasị agba nke mbụ ya e wepụtara n'afọ 1965.

### 2.0 Mbunuche

Na ngwụcha nkụzi a, e bu n'obi na nwata akwụkwọ ga-enwe ike:

a. kọwaa nhazi ụtọ asụsụ
b. see eserese na-egosi etu ụtọ asụsụ si dị n'echiche mmadụ
c. kọwaa ndịmiche n'etiti nnwemike na mmepụta

### 3.0 Ndịna kpọm kwẹm

### 3.1 Ụtọ asụsụ mgbanwe

Ụtọ asụsụ mgbanwe bụ nke e ji ụtọ asụsụ nsiniwu wee mara. Ọ na-agbaso iwu ole na ole wee na-emebe ahịrị okwu agụta agụta. Site na etu e si hazie ụtọ asụsụ n'echiche mmadụ nke a

egosipụtarala, a ga-achọpụta na alaka nke ọ bụla n’ụtọ asụsụ mgbanwe nwere ọrụ pụrụ iche ọ na-arụ na ndokọ ahịrị okwu. Nke ọ bụla na-akọwa n’ụzọ nke ya, ihe na-eme oge a na-emebe ahịrị okwu n’ogo ọ bụla. Ọ bụ nke a nyere aka n’ịghọta etu asụsụ si dị n’echiche mmadụ. Mbah (2010) kọwara na ụtọ asụsụ mgbanwe malitere n’ihi ọghọm atụtụ ndokọ dị ka:

i.  Nkeji, nke atụtụ ndokọ nabatara ezughi oke ịkọwa asusu.

ii. Atụtụ ndokọ na-anabata ọtụtụ iwu ndokọ

iii. Ọ na-akọwa asụsụ n'otu n’otu. Ọ naghị akọwa asụsụ dị ka o si metụta asụsụ niile.

v. O nweghi ike ikwu na ahịrị okwu gbagwọrọ agbagwọ, tinyere na


vi. Akara o ji egosipụta nkeji dị iche iche pere mpe (ihu 166).

Ọ bu n'ihi ọghọm ndị a ka e ji wube atụtụ mgbanwe. Atụtụ mgbanwe dị ka Agbẹdọ (2000:104) si kọwaa malitere iji gbazie nkọwa usoro okwu tụmadị ka o si metụta ebe atụtụ ndokọ riri mperi. O gara n'ihu kwuo na ihe e bu n'obi wee wube atụtụ ndokọ gụnyere ndị a:

a.) iji gosi na ahịrị okwu, nke usoro okwu ya dị iche iche nwere ike inwe otu ntọnala ma nwee otu nghota ma ọ bụ echiche.

b) iji gosi na ahịrị okwu yiri onwe ya n'agba elu nwere ike isi n'agba ala, nke dị iche iche wee pụta

Na nchịkọta, ihe mejupụtara ụtọ asụsụ bụ alaka usoro okwu, alaka echiche na alaka akpọmakpọ. Ọrụ alaka echiche na alaka akpọmakpọ bụ ịkọwa ahịrị okwu e wubere. Ha enweghi ọrụ ọ bụla na mwube ahịrị okwu. N’aka nke ọzọ, alaka usoro okwu na-arụ ọrụ mwube ahịrị okwu. O nwekwazịrị alaka abụọ dị ka agba ala na mgbanwe. Ọ na-ewepụta iwu e ji emebete ahịrị okwu n’ụzọ ndị nwe asụsụ nabatara. Ụtọ asụsụ mgbawe nwere ụdịdị, ndị e wubere n’agbata oge dị iche iche; nke mbụ ya, nke Chomsky wubere n’afọ 1965 bụ atụtụ izugbe dị ka  ọ dị n’eserese a:



**Eserese ụtọ asụsụ mgbanwe**

Eserese a na-akọwa na ọ bụ iwu ndokọ nkebi okwu na ọdọnọ ka e ji ewube agba ala ahịrị okwu. Oge e wubechara agba ala, a bịa nwee mgbanwe. Site na mgbanwe, e nweta agba elu ahịrị okwu ebe ọgbara okwu ga-ekwe mkpọpụta site n'iwu akpọmakpọ dị iche iche dị ka mmafe mgbakwụnye. Otu ihe gbara ọkpụrụ e ji mara ụdị atụtụ mgbanwe nke e wubere n'afọ 1965 bụ na e kwenyere na echiche zuru oke n'agba ala ahịrị okwu. N'ihi nke a, o nweghi echiche ọ bụla mgbanwe na-eweta. E kwenyekwara na e nwere ike ịtụle asụsụ naanị n'ogo abụọ: ogo mkpụrụ okwu nakwa ogo nkebi okwu. Atụtụ a dị ire n'oge ahụ tupu e megharịa ya n'afọ dị iche iche site n'ihe ndị nchọcha dị iche iche chọpụtara gbasara asụsụ.

## 4.0 Mmechi

N'ihe ọmụmụ a, e labara anya n'etu e si hazie ụtọ asụsụ n'enyo echiche mmadụ

## 5.0 Nchịkọta

Na nchịkọta, isi okwu a lebara anya n'etu e si ahazi ụtọ asụsụ ka o gosi etu e si ebu ya n'uche. E nwere ụzọ atọ, ndị e ji eme nke a. Nke mbụ bụ usoro mwekọta mkpụrụ okwu na mgbakwụnye, ndị a ga-eji mebee ahịrị okwu. Nke abụọ bụ mgbanwe nke agba nke mbụ na-agabiga, nke na-apụta ihe na mkpọpụta na echiche ọ na-egosi.

## 6.0 Ihe omume

Depụta ihe kpalitere amụmamụ ụtọ asụsụ mgbanwe.

## 7.0 Nrụmaka/ngụmi


Agbẹdọ, C. U. (2000). *General linguistics: An introductory reader.* Nsukka: ACE Resources.

Anagbọgụ, P. N., Mbah, B. M. & Eme, C. A. (2010). *Introduction to linguistics* (mbgh. nke 2) Awka: Amaka.

Ikekeọnwụ C. I., Ezikeojiakụ, P. A., Ụbanị A. & Ugọjị, J (1999). *Fọnọloji na grama Igbo.* Ibadan: University Press.

Mbah, B. M. (1999). *Studies in syntax. Igbo phrase structure*. Nsukka: Prize Publishers

Mbah, B. M. (2011). *GB syntax: A minimalist theory and application to Igbo*. Cross River: Association of Nigerian Authors.

Mbah B. M, Mbah E. E (2014) *Atụmatụ amụmamụ asụsụ*. University of Nigeria Press Ltd.

Nwẹya, G. O. (2014). Igbo Grammar I. LII 221 Ndetu ihe nkụzi, Mahadum Ibadan, Naịjiriạ.

Nwẹya, G. O. (2013). Mmetụta dị n'etiti usoro okwu na echiche. *Ekwe: Jọnalụ Otu Jikọrọ Ndị ji Edemede Akwalite Asụsụ na Omenala Igbo, Alaka ya nke Naịjiriạ.* Awka: Igbo Scholars Forum. Vọl.. 1. No.1, 112-131.

Nwẹya, G. O. (2018). The Igbo clause structure and the cartography of the complementiser phrase domain. Nchọcha PhD, Nnamdị Azịkiwe University, Awka.

Nwẹya, G. O. (2021). Articulated structure of the Igbo tense phrase domain. *Journal of West African Language.* Vọl 48, Nọ. 2. 1-20.

Ouhalla, J. (1991). *Functional categories and parametric variation*. London: Routledge.

Radford, A. (2009). *Analysing English sentences: A minimalist approach.* New York: Cambridge University Press.

Taiwo, O. (2010). Transformational grammar I. LIN 321 Ndetu ihe nkụzi, Mahadum Ibadan, Naịjiriạ.

Taiwo, O. (2016). Transformational grammar II. LIN 421 Ndetu ihe nkụzi, Mahadum Ibadan, Naịjiriạ.

**Yunit 3 Agba ala**

**Ndịna**

1.0 Mkpọlite

2.0 Ebumnobi

3.0 Ndịna kpọm kwẹm

3.1 Agba ala

4.0 Mmechi

5.0 Nchịkọta

6.0 Ihe omume onye nkụzi ga-amaakị

7.0 Nrụmaka/ngụmi

## 1.0 Mkpọlite

Yunit nke abụọ a lebara anya n'ụtọ asụsụ mgbanwe dị ka ụtọ asụsụ e wubere maka ileba anya n'usoro e si ewube ahịrị okwu n'asụsụ. A kọwara na ọ bụ atụtụ na-akwado ka e jiri iwu ole na ole mebete ahịrị okwu enwe obe. Ọ bụ n'agba ala ahịrị okwu ka nkwenye kachasị apụta ihe n'ihi na ọ bụ ya na-egosi ntọnala ahịrị okwu ọ bụla. N'agba ala, a na-egosipụta mmekọrịta usoro okwu na echiche. N'ihi nke a, ọ dị mkpa na nwa akwụkwọ ọ bụla nwere mmasị n'ịmụta ụtọ asụsụ mgbanwe ghọtara ka e si ewube agba ala ahịrị okwu ọ bụla. Ya bụ na nkeji nkụzi ga-akọwa ka ọdọnọ, iwu nkebi okwu na iwu ndị ọzọ sị arụkọ ọrụ iji wube agba ala ahịrị okwu n'asụsụ.

## 2.0 Mbunuche

Na ngwụcha nkụzi a, e bu n'obi na nwata akwụkwọ ga-enwe ike:

a. kọwaa ihe agba ala pụtara.
b. depụta iwu ndị dị mkpa na mmebe agba ala ahịrị okwu
c. kọwaa ọdọnọ na iwu nkebi okwu

## 3.0 Ndịna kpọm kwẹm

### 3.1 Ndịna agba ala

N'ụtọ asụsụ mgbanwe, a na-ewe agba ala dị ka ebe okwu nọ n'ọnọdụ chi ha; e nwebeghi mgbanwe n'ụdị ọ bụla. N'echiche Chomsky (1965), ọ bụ n'ogo a ka echiche ahịrị okwu na-ezu oke n'ihi na mgbanwe anaghị ewebata echiche ọ bụla n'ahịrị okwu e wubere. Ọ bụ site n'ọdọnọ na iwu ndokọ nkebi okwu ka e si ewube agba ala ahịrị okwu. N'ihi nke a, a ga-asị na ha bụ ngwa ọrụ, ndị e ji ewube agba ala ahịrị okwu. Ọ bụ ihe e wubere n'agba ala na-ezipụta echiche ahịrị okwu e wubere tupu e nwee mgbanwe. N'ebe a, ọ dị mkpa ka a kọwaa ka ọdọnọ, iwu nkebi okwu na alaka agba ala ndị ọzọ si arụ ọrụ a.

**Ọdọnọ**

Nke a bụ ebe mkpụrụ okwu niile, nke asụsụ a na-ekwu maka ya dị. Ọ bụ nkọwa okwu na-enweghi nhazi dị n'echiche mmadụ, nke na-egosi mkpụrụ okwu niile onye ahụ mara. Ọ na-akọwa nkeji asụsụ, echiche na usoro mkpọpụta mkpụrụ okwu ndị a. Iji maa atụ, ọ bụrụ na e were *Ùbé* dị ka otu mkpụrụ okwu e nwere n'ọdọnọ asụsụ Igbo, e nwere ozi atọ gbara ọkpụrụkpụ ọdọnọ na-ezipụta gbasara mkpụrụ okwu a ọ bụla. Ha bụ

**Nkeji asụsụ**: Ọdọnọ na-eme ka a mata mmewere mkpụrụ okwu nke asụsụ ọ bụla dị ka o si metụta usoro okwu. Iji Igbo maa atụ, ọdọnọ na-akọwa na *Ùbé* bụ mkpọ aha site n'ọnọdụ ya na echiche ọ na-ezipụta n'ahịrị okwu. N'ihi nke a, ọkọwa okwu ọ bụla na-ekwu nkeji asụsụ mkpụrụ okwu danyere na ya.

**Akpọmakpọ***:* Ọ na-emekwazị ka a mata etu e si akpọpụta mkpụrụ okwu ọ bụla. Iji maa atụ, mkpọpụta *Ùbé* bụ */ùbé/* (ụda olu ala - ụda olu elu). Oge mmadụ na-asụsụ Igbo, o were mkpụrụ okwu n'ọdọnọ, ọ ga-ewerekwa usoro mkpọpụta ya ma tinye ya n'ọrụ etu o kwesiri. Usoro mkpọpụta dị nnukwu mkpa na mwube ahịrị okwu Igbo n'ihi mgbawe na mkpọpụta nwere ike iweta mgbanwe n'echiche mkpụrụ okwu.

**Echiche***:* Mkpụrụ okwu ọ bụla nwere echiche ọ na-ezipụta. Oge ọ bụla a họrọ mkpụrụ okwu n'ọdọnọ; a na-ahọrọ echiche ya n'otu aka ahụ. Echiche ya bụ enyo ahụ na-agbata mmadụ n'obi oge a kpọpụtara mkpụrụ okwu ahụ. Ube bụ *mkpụrụ osisi, nke a na-aracha aracha dị n'ụdị dị*

*iche iche*. Mkpụrụ okwu ọ bụla nwere njirimara, nke na-akọwa okwu ndị ya na ya ga-adagba. Iwu na-ahụ maka nke a ka a na-akpọ mgbochi nhọrọ.


**Iwu Ndokọ Nkebi okwu**

Otu nkwekọrịta dị n'amụmamụ asụsụ kemgbe afọ iri ise gara aga bụ na ihe mejupụtara ahịrị okwu ọ bụla bụ nkebi okwu. N'ihi nke a, ahịrị okwu dị ka:

(1) Nwata a sere okerekwu ahụ

Nwere nkebi okwu abụọ. Ha bụ **nkebi okwu mkpọ aha** (NM), *Nwata a* na **nkebi okwu ngwaa** (NN) *sere okerekwu*. A gbarie NN ahụ, a ga-enweta **ngwaa** *sere* na NM *okerekwu*. E nwekwazịrị ike ịgbari NM ndị a ma nweta **mkpọ aha** *nwata/okerekwu* na *a/ahụ* nrụ aka. Mmewere ndị ikpeazụ a bụcha mkpụrụ okwu si n'ọdọnọ.

Site na nkọwa a, o kwesiri ka a ghọta na iwu ndokọ nkebi okwu na-ezipụta usoro e si ewube nkebi okwu, nkebi ahịrị ma ọ bụ ahịrị okwu n'asụsụ a na-ekwu maka ya. Ọ na-agbatị mkpụrụ okwu site n'ịkọwa mkpụrụ okwu ndị nwere ike isote ibe ha na nkebi okwu ọ bụla nakwa etu ha si eme nke a.  N'ụzọ dị etu a, a na-emebe nkebi okwu ọhụrụ.





Eserese a na-egosi na ọ bụ nkebi okwu ka e ji ewube ahịrị okwu. N'asụsụ ọ bụla, e nwere iwu ndeghari na-achịkwa ka e si ewube nkebi okwu. Iji maa atụ, iwu ndokọ nkebi okwu bụ iwu na-akọwa mmekọrịta dị n'etiti usoro okwu na nghọta okwu dị ka ọ si metụta ahịrị okwu ọ bụla. Ọ na-akọwa ka mkpụrụ okwu si esote onwe ha na nkebi okwu ọ bụla. Ọ bụ n'ihi nke a ka e jiri kpọọ ya iwu ndeghari.


Dị ka e kwuru na mbụ, iwu ndokọ nkebi okwu na-enye aka n'iwube ahịrị okwu n'agba ala tupu e nwee mgbanwe. Ọ na-adịkarị n'usoro a.

A → B + CH


Nke a pụtara na ihe mejupụtara 'A' bụ 'B' na 'CH'. N'ebe a, 'A' nwere ike ịbụ nkebi okwu mkpọ aha ma ọ bụ nkebi okwu ngwaa, ebe 'B' na 'CH' nwere ike ịbụ ngwaa na mkpọ aha ma ọ bụrụ na 'A' bụ nkebi okwu ngwaa. Eserese nkebi okwu, nke na-esote zipụtara nke a.




Ọmụma atụ ndị ọzọ gụnyere: *Akwụkwọ ọma ahụ*




NM → N (Nk) (Nr)




MMb → Mb N

Na nchịkọta, iwu ndokọ nkebi okwu na-ezipụta usoro e si ewube nkebi okwu, nkebi ahịrị na ahịrị okwu n'asụsụ a na-ekwu maka ya. Site n'ime nke a, ọ ga-akọwa nkeji asụsụ na ọrụ nke ọ bụla na-arụ na etu ha ga-esi sote onwe ha na ndokọ ahịrị. Ọ bụrụ na e tinye mkpụrụ okwu na mgbakwụnye ọ bụla n'ọnọdụ kwesiri ya, e nweta agba ala bụ ebe echiche na-apụta ihe n'ahịrị okwu. Iwu ndokọ nkebi okwu na akara e ji ezipụta ya n'asụsụ Igbo gụnyere.

A → NM + No + NN

NM → M + Nk + Nr

NN → Ng + NM + NMb

MMb → Mb + NM

A → Ahịrịokwu

NM → Nkebi okwu mkpọ aha

No → Ngosị oge

NN → Nkebi okwu ngwaa

M → Mkpọ aha

NK → Nkọwa

Nr → Nrụ aka

Ng → Ngwaa

MMb → Nkebi okwu mbu ụzọ

MB → Mbu ụzọ

**Nkọwa Ndokọ (NN)**: Nke a bụ ndokọ e nwere tupu e nwee mgbanwe.

**Mgbanwe Ndokọ** (MN): Nke a bụ ndokọ a na-enweta oge e nwechara mgbanwe.

**Ọmụma atụ**

NN → Okoeke ndịnazụ ga ahịa

MN → Okoeke ga ndịnazụ ahịa

Agba elu (AE) → Okoeke gara ahịa

NN → Ị ga-apụ

MN → ϕ ϕ ϕ pụ ọ

Agba elu → pụọ

NN → Unu ndịnihụ bịa

MN ϕ ϕ bịa nụ

Agba elu bịanụ

Ọmụma atụ nke mbụ na-akọwa ụzọ, nke e si enweta ngosi oge ndịnazụ, ebe ndị ọzọ na-akọwa ụzọ e si enweta ahịrị ntimiwu. O kwesiri ka a ghọta na echiche na-ezu oke n'agba ala tupu e nwee mgbanwe. Nke a pụtara ihe n'ọmụma atụ, nke e nyerela.

**Nnwale onwe**

Depụta iwu nkebi okwu maka nkebi mkpọ aha n'Igbo ma jiri ya mebete nkebi okwu iri dị iche iche

**4.0 Mmechi**

Ihe ọmụmụ a lebara anya n'agba ala dị ka ogo e nwere n'ụtọ asụsụ mgbanwe, nke na-egosi ebe okwu niile nọ n'ọnọdụ chi ha. Ọ bụ ọdọnọ na iwu nkebi okwu bụ ọkpụrụkpụ ngwa ọrụ, nke e ji ewube agba ala ahịrị okwu.

**5.0 Nchịkọta**

Na nchịkọta, ihe ọmụmụ a kọwara agba ala dị ka ebe okwu niile nọ n'ọnọdụ chi ha. Ọnọdụ ha na-egosi ọrụ na echiche ha nwere n'ahịrị okwu. Ọ bụ ọdọnọ na iwu nkebi okwu ka e ji emebete agba ala ahịrị okwu, ebe a na-ewe na echiche ahịrị okwu ọ bụla zuru oke. N'ihi nke a, a na-egosi

na ahịrị okwu abụọ, ndị agba elu ha dị iche iche nwere ike isi n’otu agba ala. Ọdọnọ, dị ka a kọwara, bụ ebe mkpụrụ okwu niile e nwere n’asụsụ dị n’echiche mmadụ. Iwu na-ejikọta mkpụrụ okwu ndị ọnụ dị ka mmewere ahịrị okwu bụ iwu nkebi okwu.

## 6.0 Ihe omume

- Jiri atụ dabara nke ọma kọwaa ụzọ ozi atọ ọdọnọ na-ezipụta gbasara mkpụrụ okwu ọ bụla e nwere n’asụsụ.
- Depụta njirimara agba ala n’atụtụ mgbanwe.
- Kọwaa iwu nkebi okwu na uju ma nye atụ iwu dị iche iche e nwere ike iji mebee nkebi okwu n’Igbo

## 7.0 Nrụmaka/ngụmi


Agbẹdọ, C. U. (2000). *General linguistics: An introductory reader.* Nsukka: ACE Resources.

Anagbọgụ, P. N., Mbah, B. M. & Eme, C. A. (2010). *Introduction to linguistics* (mbgh nke 2) Awka: Amaka.

Ikekeọnwụ C. I., Ezikeojiakụ, P. A., Ụbanị A. & Ugọjị, J (1999). *Fọnọloji na grama Igbo.* Ibadan: University Press.

Mbah, B. M. (1999). *Studies in syntax. Igbo phrase structure*. Nsukka: Prize Publishers

Mbah, B. M. (2011). *GB syntax: A minimalist theory and application to Igbo*. Cross River: Association of Nigerian Authors.

Mbah B. M, Mbah E. E (2014) *Atụmatụ amụmamụ asụsụ*. University of Nigeria Press Ltd.

Nwẹya, G. O. (2014). Igbo Grammar I. LII 221 Ndetu ihe nkụzi, Mahadum Ibadan, Naịjirịa.

Nwẹya, G. O. (2013). Mmetụta dị n’etiti usoro okwu na echiche. *Ekwe: Jọnalụ Otu Jikọrọ Ndị ji Edemede Akwalite Asụsụ na Omenala Igbo, Alaka ya nke Naịjirịa.* Awka: Igbo Scholars Forum. Vọl. 1. Nọ.1, 112-131.

Nwẹya, G. O. (2018). The Igbo clause structure and the cartography of the complementiser phrase domain. Nchọcha PhD, Nnamdị Azịkiwe University, Awka.

Nwẹya, G. O. (2021) Articulated structure of the Igbo tense phrase domain. *Journal of West African languages.* Vọl 48, Nọ 2. 1-20.

Ouhalla, J. (1991). *Functional categories and parametric variation*. London: Routledge.

Radford, A. (2009). *Analysing English sentences: A minimalist approach.* New York: Cambridge University Press.

Taiwo, O. (2010). Transformational grammar I. LIN 321. Ndetu ihe nkụzi, Mahadum Ibadan, Naịjirịa.

## Yunit 4 Agba elu

**Ndịna**

1.0 Mkpọlite

2.0 Ebumnobi

3.0 Ndịna kpọm kwẹm

3.1 Ndịna agba elu

4.0 Mmechi

5.0 Nchịkọta

6.0 Ihe omume onye nkụzi ga-amaakị

7.0 Nrụmaka/ngụmi

### 1.0 Mkpọlite

Dị ka elebacharala anya n’agba ala dị otu n’ogo ntụle usoro okwu e nwere n’ụtọ asụsụ mgbanwe, ọ dị mkpa ka e lebakwazie anya n’agba elu. Ọ bụrụ na e wubechaa okwu n’agba ala, ọ naghị ekwe mkpọpụta n’ihi na okwu niile ka nọ n’ọnọdụ chi ha. Ọ bụ n’ihi nke a ka agba elu ji dị oke mkpa.

### 2.0 Mbunuche

Na ngwụcha nkụzi a, e bu n’obi na nwata akwụkwọ ga-enwe ike

a. Kọwaa agba elu dị ogo e nwere n’ụtọ asụsụ mgbanwe
b. Depụta ndịmiche n’etiti agba ala na agba elu dị alaka ụtọ asụsụ mgbanwe

### 3.0 Ndịna dam dam

### 3.1 Agba elu

Agba elu bụ alaka na-ahụ maka nhazị mmewere ahịrị okwu n’ụzọ ọ ga-esi kwe mkpọpụta. Ọ bụ ya bụ ogo, nke a na-enweta ka e nwesiri mgbanwe n’okwu e wubere n’agba ala. Ọ na-ezipụta ahịrị okwu n’ụzọ ọ ga-esi kwe mkpọpụta. Otu alaka dị oke mkpa tupu e nweta agba elu bụ alaka mgbanwe. O nwere ọrụ dị iche iche ọ na-arụ n’ụtọ asụsụ. Ọ na-akọwa ụzọ e nwere ike isi were mmewere ahịrị okwu ọ bụla si n’otu ebe gaa n’ebe ọzọ n’ahịrị okwu. Ya bụ na mgbanwe na-

akọwa na ọ bụghi mgbe niile ka nghọta na-apụtacha ihe n’agba ala. N’ihi ya, ọ dị mkpa na a ga-agbanwe ọdịdị ya iji mee ka ọgbara okwu ahụ nwee ezi echiche ma kwe mkpọpụta. Mgbanwe nwere ike ịbụ iwepụ ihe dị n’agba ala ahịrị okwu ma mee ka ọ ghara ịpụta mgbe a na-akpọpụta ahịrị okwu. O nwekwara ike ịbụ ịgbakwụnye okwu na-adịghị n’agba ala ahịrị okwu ka ọ pụta ihe mgbe a na-akpọpụta ahịrị okwu. Mgbakwụnye ma ọ bụ ntinye nwere ike iji okwu adibụghị n’agba ala ahịrị okwu gbanweta nke dịbu na ya. Nke a ga-eme ka nke ahụ dịbu na ya ghara ịpụta na mkpọpụta ya bụ ahịrị okwu, ebe nke e ji gbanweta ya ga-apụta. Nkọwa niile ndị a gosiri na iwu mgbanwe gbasara ụzọ e nwere ike ịgbaso wee si n’otu ebe wega mmewere n’ebe ọzọ n’ahịrị okwu. A ga-alọghachite azụ ileba anya n’ụdị mgbanwe dị iche iche pụtara ihe n’asụsụ Igbo.

Dị ka o si metụta atụtụ mgbanwe, nke izugbe ya e wubere n’afọ (1965), echiche na-apụta ihe naanị n’agba ala. Alaka echiche nwere iwu mgbatị, nke na-ejikọ ya na agba ala. Mgbe a na-ewube agba ala ahịrị okwu, a na-atụle echiche mkpụrụ okwu ọ bụla na mkpụrụ okwu ndị ya na ya ga-adagba. Nke a ga-ezipụtazị echiche ahịrị okwu ga-enwe oge e wubechara ya. Mana agba ụtọ asụsụ mgbanwe, nke e wepụtara ka afọ 1965 gachara na-egosi na agba elu na-etinyeso echiche n’usoro okwu. Lezie anya n’ahịrị okwu ndị a:

1. a. Agba ala: Uche zara ụlọ nna ya.

   b. Agba elu: Ụlọ nna ya ka uche zara.

N’agba ụtọ asụsụ mgbanwe nke mbụ ya, a ga-asị na o nweghi echiche batara n’ahịrị okwu nke abụọ. Mana ka e mechara ndị ntụle asụsụ kwenyere na mbughari, nke e nwere n’ahịrị okwu tinyere echiche ọhụrụ nke mere *ụlọ nna ya* pụta ihe dị ka okwu a kpụ n’ọnụ n’ahịrị okwu nke abụọ.

**Alaka Akpọmakpọ**

Nke a na-apụta ihe n’agba elu ahịrị okwu. Oge e nwechara mgbanwe n’agba ala ahịrị okwu, a na-enweta agba elu ahịrị okwu. Ọ bụ n’ogo agba elu ka a na-ezipụta etu e si akpọpụta ahịrị okwu e wubere. Ya bụ na alaka akpọmakpọ na-akọwa etu a ga-esi kpọpụta ahịrị okwu e mebere. N’ihi nke a, e ji nwee iwu mmebe-mkpọpụta**.** Oge ọ bụla a na-ekwu maka ụtọ asụsụ mgbanwe, a ghaghị ikwu maka iwu mmebe-mkpọpụta; iwu a na-apụta ihe n’alaka akpọmakpọ. Ọ na-eleba

anya n’ezi mkpọpụta mkpụrụ okwu e nwetara site n’iwu usoro okwu. Ọ bụ iwu na-achịkwa ntinye mgbakwanye na mkpụrụ okwu na ngosipụta usoro mkpọpụta ha, d.k.

2. a. ra + ga → gara

b. ghị + ga → gaghị

ch. ela + je → jeela

d. e + je → eje

Na nchịkọta, a ga-aghọta na iwu mmebe-mkpọpụta na-akọwa etu e si ejikọ mgbakwụnye ngosi oge na isi ngwaa n’ahịrị okwu Igbo; o nweghi nkeji asụsụ ọzọ na-anabata mgbakwụnye n’asụsụ Igbo ma e wezụga ngwaa.

## 4.0 Mmechi

N’ihe ọmụmụ a, e labara anya n’agba elu dị ka otu n’ogo ntụle asụsụ e nwere n’ụtọ asụsụ mgbanwe. Agba elu na-eme ka okwu e wubere n’agba ala kwe mkpọpụta. Ihe na-enyere aka ime nke a bụ alaka akpọmakpọ.

## 5.0 Nchịkọta

Na nchịkọta, agba elu na-egosi ọdịdị ahịrị okwu oge e nwecharala mgbanwe. Ọ na-eme ka a chọpụta ma ahịrị okwu abụọ yiri onwe ha esi n’otu agba ala.

## 6.0 Ihe omume

Kọwaa agba elu dị ka otu n’ogo ntụle asụsụ e nwere n’ụtọ asụsụ mgbanwe

## 7.0 Nrụmaka/ngụmi

Agbẹdọ, C. U. (2000). *General linguistics: An introductory reader.* Nsukka: ACE Resources.

Anagbọgụ, P. N., Mbah, B. M. & Eme, C. A. (2010). *Introduction to linguistics* (mbgh. nke 2) Awka: Amaka.

Ikekeọnwụ C. I., Ezikeojiakụ, P. A., Ụbanị A. & Ugọjị, J (1999). *Fọnọloji na grama*

*Igbo.* Ibadan: University Press.
Mbah, B. M. (1999). *Studies in syntax. Igbo phrase structure*. Nsukka: Prize Publishers
Mbah, B. M. (2011). *GB syntax: A minimalist theory and application to Igbo*. Cross River: Association of Nigerian Authors.
Mbah B. M, Mbah E. E (2014) *Atụmatụ amụmamụ asụsụ*. University of Nigeria Press Ltd.
Nwẹya, G. O. (2014). Igbo Grammar I. LII 221 Lecture note.
Nwẹya, G. O. (2013). Mmetụta dị n'etiti usoro okwu na echiche. *Ekwe: Jọnalụ Otu Jikọrọ Ndị Ji Edemede Akwalite Asụsụ na Omenala Igbo, Alaka ya nke Naịjirịa.* Awka: Igbo Scholars Forum. Vọl.. 1. No.1, 112-131.
Nwẹya, G. O. (2018). The Igbo clause structure and the cartography of the complementiser phrase domain, Nchọcha PhD, Nnamdị Azịkiwe University, Awka.
Nwẹya, G. O. (2021) Articulated structure of the Igbo tense phrase domain. *Journal of West African languages.* Vọl 48, Nọ. 2. 1-20.
Ouhalla, J. (1991). *Functional categories and parametric variation*. London: Routledge.
Radford, A. (2009). *Analysing English sentences: A minimalist approach.* New York: Cambridge University Press.
Taiwo, O. (2010). Transformational grammar I. LIN 321. Ndetu ihe nkụzi, Mahadum Ibadan, Naịjirịa.
Taiwo, O. (2016). Transformational grammar II. LIN 421. Ndetu ihe nkụzi, Mahadum Ibadan, Naịjirịa.

**Modul 4 Mgbanwe na ụdịdị ya**

Yunit 1 Mbugharị

Yunit 2 Mwepụ

Yunit 3 Ntinye

Yunit 4 Mgbanwerịta

**Yunit 1 Mbugharị**

**Ndịna**

1.0 Mkpọlite

2.0 Ebumnobi

3.0 Ndịna kpọm kwẹm

3.1 Nkọwa na ụdịdị mgbanwe

3.2 Mbugharị

4.0 Mmechi

5.0 Nchịkọta

6.0 Ihe omume onye nkụzi ga-amaakị

7.0 Nrụmaka/ngụmi

## 1.0 Mkpọlite

Otu alaka dị oke mkpa e nwere n'ụtọ asụsụ mgbanwe bụ alaka mgbanwe. O nwere ọrụ dị iche iche ọ na-arụ n'ụtọ asụsụ. Ọ na-akọwa ụzọ e nwere ike isi were mmewere ahịrị okwu ọ bụla si n'otu ebe gaa n'ebe ọzọ n'ahịrị okwu. mgbanwe gbasara ụzọ e nwere ike ịgbaso si n'otu ebe wega mmewere n'ebe ọzọ n'ahịrị okwu. N'ebe a, e labara anya na mgbanwe n'uju a.

## 2.0 Mbunuche

Na ngwụcha nkụzi a, e bu n'obi na nwata akwụkwọ ga-enwe ike:

a. Kọwaa mgbanwe
b. Jiri atụ zipụta etu mbugharị si pụta ihe n'asụsụ Igbo

## 3.0 Ndịna kpọm kwẹm

### 3.1 Mgbanwe: nkọwa na ụdịdị ya

Dị ka e kwurula, mgbanwe na-akọwa na ọ bụghị mgbe dum ka agba ala ahịrị okwu na-enwe echiche. N'ihi ya, ọ dị mkpa na a ga-agbanwe ọdịdị ya iji mee ka okwu e wubere n'agba ala nwee ezi echiche ma kwe mkpọpụta. Ya bụ na mgbanwe gụnyere ibugharị okwu ma ọ bụ mkpụrụ okwu site n'otu akụkụ ahịrị okwu gaa n'akụkụ ọzọ. Mgbanwe nwere ike ịbụ iwepụ ihe dị n'agba ala ahịrị okwu ma mee ka ọ ghara ịpụta mgbe a na-akpọpụta ahịrị okwu. O nwekwara ike ịbụ ịgbakwụnye okwu na-adighị n'agba ala ahịrị okwu ka ọ pụta ihe mgbe a na-akpọpụta ahịrị okwu. Mgbakwụnye ma ọ bụ ntinye nwere ike iji okwu adịghị n'agba ala ahịrị okwu gbanweta nke dịbu na ya. Nke a ga-eme ka nke ahụ dịbu na ya ghara ịpụta na mkpọpụta ya bụ ahịrị okwu, ebe nke e ji gbanweta ya ga-apụta.

E nwere ụdị mgbanwe anọ pụtara ihe ma a gbado ụkwụ na nkọwa enyerela. Ha bụ.

(a) Mbugharị

(b) Mwepụ

(c) Mgbakwụnye

(d) Mgbanwerịta

**Mbụgharị**

Mbụgharị bụ ụdị mgbanwe na-esi n'otu ebe wefee okwu ma ọ bụ nkebi okwu n'ebe ọzọ n'ahịrị okwu. Ụdịdị mwube na-egosipụta nke a gụnyere:

(a) Mmafe mgbakwụnye

(b) Ime okwu isi okwu

(c) Mwube ajụjụ

**Mmafe mgbakwụnye**

Nke a bụ mbugharị e bugharịrị mgbakwụnye, nke a gbakwụnyere ngwaa site n'ọnọdụ chi ya gafee n'ọnọdụ mkpọ aha ka o kwe mkpọpụta. Mgbakwụnye anaghị amafe karịa otu mkpụrụ okwu otu oge. Ya mere e ji asị na ọ bụ mgbanwe ikpeazụ a na-enwe n'ahịrị okwu, ịma atụ

(3) Uche zụtara akwụkwọ

| | | |
|---|---|---|
| Usoro mwube nke a bụ | Agba ala: | Uche Tensị zụta akwụkwọ |
| | Agba ala: | Uche Tensị ndịnazụ zụta akwụkwọ |
| | Agba ala: | Uche –ra zụta akwụkwọ |
| | Mmafe mgbakwụnye: | Uche zụta –ra akwụkwọ |
| | Iwu akpọmakpọ: | Uche zụtara akwụkwọ |
| | Agba elu: | Uche zụtara akwụkwọ |

N'atụ a, mgbakwụnye '*–ra*' si n'ọnọdụ agba ala ya gaa n' ọnọdụ agba elu ya ebe mkpọpụta ga-adị mfe. Nke a mekwara ka echiche pụtawanye ihe karịa ka ọ dị n'agba ala.

**Mwube Ajụjụ**

Na mwube ụdị ajụjụ dị iche iche, a na-enwe mbugharị. N'asụsụ Igbo, a na-enwe mbugharị n'iwube ụdị ajụjụ nke ọ bụla. Ha gụnyere:

*Ajụjụ nkodo*: Oge a na-ewube ajụjụ, nke kodoro n'ahịrị nkwusara, a na-enwe mbugharị. A na-esi n'isi ahịrị bufee ajụjụ n'ọdụ ahịrị.

| | | |
|---|---|---|
| 4. | Agba ala | Agba elu |
| | Osita bịara, ọ bụkwa ya? | Ọ bụkwa Osita bịara? |
| | Ndụka dara ule, ọ bụkwa ya | Ọ bụkwa Ndụka dara ule |
| | Amaka na-ekwu okwu ugbu, ọ bụkwa ya? | Ọọkwa Amaka na-ekwu okwu ugbu? |

**Ajụjụ ee ma ọ bụ mba**

Ajụjụ ee/mba bụ ụdị ajụjụ, nke ee ma ọ bụ mba zuru ịsa ya. A na-enwekarị mbugharị oge a na-ewube ya n'ihi na isi ahịrị na-esi na mpaghara ngosi oge gaa na mgbaghara isi nkebi ahịrị ndabe. Hụ ọmụma atụ ndị a:

| | | |
|---|---|---|
| (5) | Okoeke gara ahịa? | Okoeke ọ gara ahịa? |
| | Ụlọ akụ dara ada? | Ụlọ akụ ọ dara ada? |
| | Ha jere ọrụ ta a? | Ha e jere ọrụ ta a? |
| | Unu ma ndị ha bụ? | Unu a ma ndị ha bụ? |

**Ajụjụ onye:** Nke a bụ ụdị ajụjụ, d.k.

| (6) | | Agba ala | Agba elu |
|---|---|---|---|
| | (a) | Osita bịara, ọ bụkwa ya? | Ọ bụkwa Osita bịara? |
| | (b) | Okafọ jere akwụkwọ? | Okafọ o jere akwụkwọ? |
| | (ch) | Odo mara onye ụra? | Onye ka Odo mara ụra? |

Na (6)a *ya* nọchiri anya ahịrị nkwe e si na ya mebee njụ ajụjụ. Na 6b, e bugharịrị *Okafọ* nke mere ka e nwee nnọchi aha ebe e si bupụ ya. Na (6)ch, e bufere ọdụ ahịrị n'ọnọdụ isi ahịrị.

**Ime okwu isi okwu**

Mgbe ụfọdụ a na-eme okwu isi ụbụbọ site n'isi na mpaghara emereme ngwaa bufee ya na mpaghara omee. Mgbe nke a mere, ya bụ okwu ga-aghọzị isi okwu n'ahịrị okwu ahụ.

7a. Uche ṅụrụ mmiri ahụ

Mmiri ahụ ka Uche ṅụrụ.

b. Odo zụrụ ahịa udu mmiri

Ahịa udu mmiri ka Odo zụrụ

## 4.0 Mmechi

Nkeji nkụzi lebara anya na mbugharị dị ka otu n'ụdị mgbanwe pụtara ihe n'asụsụ Igbo. O gosiri na e nwere ụdị mbugharị dị iche iche e nwere ike ịhụ n'asụsụ. Mana ndị pụtara n'Igbo dị atọ: mmafe mgbakwụnye, ime okwu isi okwu na mwube ajụjụ

## 5.0 Nchịkọta

Na nchịkọ, a kọwara na mbugharị bụ isi otu ebe n'ahịrị okwu wega mmewere ahịrị okwu n'ebe ọzọ n'otu ahịrị okwu ahụ.

## 6.0 Ihe omume

Jiri atụ gosi ụdị mbugharị e nwere n'Igbo.

## 7.0 Nrụmaka/ngụmi


Agbẹdọ, C. U. (2000). *General linguistics: An introductory reader.* Nsukka: ACE Resources.

Anagbọgụ, P. N., Mbah, B. M. & Eme, C. A. (2010). *Introduction to linguistics* (mbgh. nke 2) Awka: Amaka.

Ikekeọnwụ C. I., Ezikeojiakụ, P. A., Ụbanị A. & Ugọjị, J (1999). *Fọnọloji na grama Igbo.* Ibadan: University Press.

Mbah, B. M. (1999). *Studies in syntax. Igbo phrase structure*. Nsukka: Prize Publishers

Mbah, B. M. (2011). *GB syntax: A minimalist theory and application to Igbo*. Cross River: Association of Nigerian Authors.

Mbah B. M, Mbah E. E (2014) *Atụmatụ amụmamụ asụsụ*. University of Nigeria, Press Ltd.

Nwẹya, G. O. (2014). Igbo Grammar I. LII 221. Ndetu ihe nkụzi, Mahadum Ibadan, Naịjiriạ.

Nwẹya, G. O. (2013). Mmetụta dị n'etiti usoro okwu na echiche. *Ekwe: Jọnalụ Otu Jikọrọ Ndị ji Edemede Akwalite Asụsụ na Omenala Igbo, Alaka ya nke Naịjiriạ.* Awka: Igbo Scholars Forum. Vọl.. 1. No.1, 112-131.

Nwẹya, G. O. (2018). The Igbo clause structure and the cartography of the complementiser phrase domain, Nchọcha PhD, Nnamdị Azịkiwe University, Awka.

Nwẹya, G. O. (2021) Articulated structure of the Igbo tense phrase domain. *Journal of West African Language.* Vọl. 48, Nọ. 2. 1-20.

Ouhalla, J. (1991). *Functional categories and parametric variation*. London: Routledge.

Radford, A. (2009). *Analysing English sentences: A minimalist approach.* New York: Cambridge University Press.

Taiwo, O. (2010) . Transformational grammar I. LIN 321. Ndetu ihe nkụzi, Mahadum Ibadan, Naịjiriạ.

**Yunit 2 Mwepụ**

**Ndịna**

1.0 Mkpọlite

2.0 Ebumnobi

3.0 Ndịna kpọm kwẹm

3.1 Mwepụ

3.2 Ụdịdị mwepụ

4.0 Mmechi

5.0 Nchịkọta

6.0 Ihe omume onye nkụzi ga-amaakị

7.0 Nrụmaka/ngụmi

## 1.0 Mkpọlite

Na yunit nke mbụ na modul a, e lebara anya na mbugharị dị ka otu n'ụdị mgbanwe pụtara ihe n'Igbo. Ugbu a, a ga-elebazi anya na mwepụ na ọmụma atụ mwepụ n'Igbo. Etu mwepụ si apụta n'asụsụ nwere ike dị iche si n'otu asụsụ gaa n'asụsụ ọzọ. N'ihi nke a, ọ dị mkpa ịmata akparamagwa asụsụ ọ bụla dị ka o si metụta isi okwu a.

## 2.0 Mbunuche

Na ngwụcha nkụzi a, e bu n'obi na nwata akwụkwọ ga-enwe ike:

a. Kọwaa mwepụ
b. Jiri atụ zipụta etu mwepụ si pụta ihe n'asụsụ Igbo.

## 3.0 Ndịna kpọm kwẹm

### 3.1 Mwepụ

Mwepụ bụ ụdị mgbanwe na-eme ka mkpụrụ okwu pụtara ihe n'agba ala ghara ịpụta ihe n'agba elu. Ọ pụtara ihe n'ụdị mgbanwe ndị a n'asụsụ Igbo.

**Ntimiwu**

Oge a na-emebe ntimiwu, a na-eme ka *ọnụụ* na *enyemaka ngwaa* nke *iwu ntinye mkpụrụ okwu* mere ka ọ pụta ihe n'agba ala ghara ịpụta ihe n'agba elu ya bụ ahịrị okwu, d.k.

| (1) | | Agba ala | Agba elu |
|---|---|---|---|
| | (a) | Ị ga-eje | Jee |
| | (a) | Ị ga-ericha nri ahụ | Richaa nri ahụ |

N'ebe a, e wepụrụ 'Ị' na 'ga' n'agba elu iji zipụta echiche ntimiwu. Oge ụfọdụ, e wepụ enyemaka ngwaa ma *ọnụụ* adị n'ụbara, a na-agbakwụnye ngosipụta *ọnụụ* n'ihu ngwaa. Ịma atụ

| (2) | | Agba ala | Agba elu |
|---|---|---|---|
| | (a) | Unu ga-abịa. | Bịanụ. |
| | (b) | Unu ga-eri. | Rienu. |

N'ebe a, mwepụ e wepụrụ *ga* na-eme na ọnụụ agaghị akwụdoli. Nke a na-eme ka nchabi ya tado n'ihu ngwaa.

**Mbugharị nnara na orite**

N'ebe a, a na-ewepụ mbu ụzọ dị n'agba ala oge a na-ebugharị orite na nnara. Mana n'asụsụ Igbo, ọ na-apụta ihe oge *maka*, *banyere* na *gbasara* na-arụ ọrụ dị ka mbu ụzọ, d.k.

(3) (a) Agba ala: A zụtara ekwe ntị maka ada ya
E kwuru okwu gbasara Okee taa

(b) Agba elu: A zụtaara ada ya ekwe nti
E kwuuru Okee okwu taa

N'agba elu, a ga-achọpụta na e wepụrụ *maka* na *gbasara*. Nke a mere ka orite na nnara nọgharịa. mgbanwe mbugharị pụtakwazịrị ihe n'ebe a.

**Mwepụ nkebi okwu nke mkpọ aha**

Oge e nwere mkpọ aha abụọ na-arụgara otu ihe aka n'agba ala ahịrị okwu, a na-ewepụ otu mkpọ aha n'agba elu ahịrị okwu ahụ.

(4) (a) Agba ala: *Okee Nwaafọ* na *Osita Nwaafọ* jere akwụkwọ.
(b) Agba elu: *Okee* na *Osita Nwaafọ* jere akwụkwọ.

N'atụ a, e wepụrụ *Nwaafọ* nke bu ụzọ n'ihi na ya na *Nwaafọ*, nke na-esote isi ahịrị nke abụọ bụ otu.

**Mwepụ nkebi okwu nke ngwaa**

N'ebe a, a na-ewepụ otu nkebi okwu ngwaa n'agba ala n'ihi na ya na nkebi okwu ngwaa ọzọ na-arụ otu ọrụ n'ahịrị okwu.

(22) (a) Agba ala: Okoeke butere akwa, Ngọzi butere akwa.

(a) Agba elu: Okoeke na Ngọzi butere akwa .

N'atụ a, e wepụrụ nkebi okwu mkpọ aha nke mbụ n'ihi na ya na ngwaa nkebi okwu mkpọ aha nke abụọ na-arụ otu ọrụ n'ahịrị okwu.

## 4.0 Mmechi

Nkeji nkụzi a, e lebara anya na mbugharị dị ka otu n'ụdị mgbanwe pụtara ihe n'asụsụ Igbo. O gosiri na e nwere ụdị mbugharị dị iche iche e nwere ike ịhụ n'asụsụ. Mana ndị pụtara n'Igbo dị atọ: mmafe mgbakwụnye, ime okwu isi okwu na mwube ajụjụ

## 5.0 Nchịkọta

Na nchịkọta, a kọwara na mwepụ bụ ime ka ihe dịbụ n'agba ala ahịrị okwu ghara ịpụta ihe n'agba elu ya otu ahịrị okwu ahụ. Nke a pụtara ihe n'ụzọ abụọ gbara ọkpụrụkpụ: Ntimiwu na mbugharị orite na nnara.

## 6.0 Ihe omume

Jiri atụ gosi ụdị mwepụ e nwere n'Igbo.

## 7.0 Nrụmaka/ngụmi


Agbẹdọ, C. U. (2000). *General linguistics: An introductory reader.* Nsukka: ACE Resources.

Anagbọgụ, P. N., Mbah, B. M. & Eme, C. A. (2010). *Introduction to linguistics* (mbgh. nke 2) Awka: Amaka.

Ikekeọnwụ C. I., Ezikeojiakụ, P. A., Ụbanị A. & Ugọjị, J (1999). *Fọnọloji na grama Igbo.* Ibadan: University Press.

Mbah, B. M. (1999). *Studies in syntax. Igbo phrase structure*. Nsukka: Prize Publishers

Mbah, B. M. (2011). *GB syntax: A minimalist theory and application to Igbo*. Cross River: Association of Nigerian Authors.

Mbah B. M, Mbah E. E (2014) *Atụmatụ amụmamụ asụsụ*. University of Nigeria Press Ltd.

Nwẹya, G. O. (2014). Igbo Grammar I. LII 221. Ndetu ihe nkụzi, Mahadum Ibadan, Naịjirịa.

Nwẹya, G. O. (2013). Mmetụta dị n'etiti usoro okwu na echiche. *Ekwe: Jọnalụ Otu Jikọrọ Ndị ji Edemede Akwalite Asụsụ na Omenala Igbo, Alaka ya nke Naịjirịa.* Awka: Igbo Scholars Forum. Vọl.. 1. Nọ.1, 112-131.

Nwẹya, G. O. (2018). The Igbo clause structure and the cartography of the complementiser phrase domain, Nchọcha PhD, Nnamdị Azịkiwe University, Awka.

Nwẹya, G. O. (2021) Articulated structure of the Igbo tense phrase domain. *Journal of West African Language.* Vọl. 48, Nọ. 2. 1-20.
Ouhalla, J. (1991). *Functional categories and parametric variation*. London: Routledge.
Radford, A. (2009). *Analysing English sentences: A minimalist approach.* New York: Cambridge University Press.
Taiwo, O. (2010) . Transformational grammar I. LIN 321. Ndetu ihe nkụzi, Mahadum Ibadan, Naịjirịa.

## Yunit 3 Ntinye

**Ndịna**

1.0 Mkpọlite

2.0 Ebumnobi

3.0 Ndịna kpọm kwẹm

3.1 Mwepụ

3.2 Ụdịdị mwepụ

4.0 Mmechi

5.0 Nchịkọta

6.0 Ihe omume onye nkụzi ga-amaakị

7.0 Nrụmaka/ngụmi

### 1.0 Mkpọlite

Dị ka a kọwarala mwepụ na yunit nke abụọ, ọ dịkwa mkpa ileba anya na ntinye dị ka otu n’ụdị mgbanwe pụtara ihe n’Igbo. Nke a dị mkpa iji hụ ka asụsụ Igbo si yite asụsụ ndị ọzọ dị ka o si metụta akparamagwa a.

### 2.0 Mbunuche

Na ngwụcha nkụzi a, e bu n’obi na nwata akwụkwọ ga-enwe ike:

a. kọwaa ntinye dị ụdị mgbanwe
b. jiri atụ zipụta etu ntinye si pụta ihe n’asụsụ Igbo

### 3.0 Ndịna kpọm kwẹm

### 3.1 Mgbakwụnye/Ntinye

Nke a bụ ụdị mgbanwe n'ụtọ asụsụ nke na-agbakwụnye okwu na-adịbgh n'agba ala n'ahịrị okwu ma mee ka ọ pụta ihe n'agba elu ya. Nke a gụnyere mgbakwụnye 'o nwere'. Mgbe omee n'ahịrị okwu dị n'ịbarị, e nwere ike ịgbakwụnye *o nwere* n'agbanweghi echiche ya bụ ahịrị okwu, d.k.

(1) (a) Agba ala: Ndị nkụzi nọ na klasị
Anụ dị na ngịga

(b) Agba elu: O nwere ndị nkụzi nọ na klasị
O nwere anụ dị na ngịga

### 4.0 Mmechi

Nkeji nkụzi lebara anya na ntinye dị ka otu n'ụdị mgbanwe pụtara ihe n'asụsụ Igbo. O gosiri na ntinye pụtara ihe n'asụsụ dị ka ntinye 'o nwere' nakwa ntinye 'ụda ume' oge a na-ewube ajụjụ ee/mba.

### 3.2 Mwube ajụjụ ee/mba

Nke a bụ ụdị ajụjụ e nwere n'asụsụ dị iche iche nke ụsa ya ga-enweriri ee ma ọ bụ mba. A na-enwere ya n'ọtụtụ asụsụ mana asụsụ niile anaghị ewube ya n'otu ụzọ. N'Igbo, a na-ewube ya site n'itinye 'ụda ume' n'agba elu ya bụ ahịrị okwu. Ụda ume ahụ nwere ike bụrụ o/ọ, a/e, i/ị. Nke a pụtara ihe n'atụ ndị a.

| | | | | |
|---|---|---|---|---|
| (1) | a. | Agba ala | = | Uche jere ahịa? |
| | | Agba elu | = | Uche **o** jere ahịa? |
| | b. | Agba ala | = | Anyị ga-eje Ọnịcha echi? |
| | | Agba elu | = | Anyị aga-eje Ọnịcha echi? |
| | Ch. | Agba ala | = | Ada ga-abịa be anyị. |
| | | Agba elu | = | Ada **ị** ga-abịa be anyị? |

N'atụ ndị a, a ga-ahụ na nnọchi ndị a e dejiri edeji adịghị n'agba ala ahịrị okwu mana ha pụtazịrị ihe n'agba elu ya. N'agba elu 1b, a ga-ahụ na 'aga' dịkọrọ ọnụ n'ihi na e debiri 'anya' edebi, ya bụ, Anyị, anyị ga-eje Ọnịcha echi? E debiri naanị 'a' bu ụzọ n''anyị'. Nke a bụ ụkpụrụ nnọchi.

## 4.0 Mmechi

## 5.0 Nchịkọta

Na nchịkọta, a kọwara na ntinye bụ ime ka ihe adịbughị n'agba ala ahịrị okwu pụta ihe n'agba elu otu ahịrị okwu ahụ. Nke a pụtara ihe n'ụzọ abụọ gbara ọkpụrụkpụ: ntinye 'o nwere' na ntinye ụkpụrụ nnọchi.

## 6.0 Ihe omume

Jiri atụ kọwaa ntinye n'uju.

## 7.0 Nrụmaka/ngụmi


Agbẹdọ, C. U. (2000). *General linguistics: An introductory reader.* Nsukka: ACE Resources.

Anagbọgụ, P. N., Mbah, B. M. & Eme, C. A. (2010). *Introduction to linguistics mbgh nke 2)* Awka: Amaka Dreams Ltd.

Ikekeọnwụ C. I., Ezikeojiakụ, P. A., Ụbanị A. & Ugọjị, J (1999). *Fọnọloji na grama Igbo.* Ibadan: University Press.

Mbah, B. M. (1999). *Studies in syntax. Igbo phrase structure*. Nsukka: Prize Publishers

Mbah, B. M. (2011). *GB syntax: A minimalist theory and application to Igbo*. Cross River: Association of Nigerian Authors.

Mbah B. M, Mbah E. E (2014). *Atụmatụ amụmamụ asụsụ*. University of Nigeria Press Ltd.

Nwẹya, G. O. (2014). Igbo Grammar I. LII 221. Ndetu ihe nkụzi, Mahadum Ibadan, Naịjiriạ.

Nwẹya, G. O. (2013). Mmetụta dị n'etiti usoro okwu na echiche. *Ekwe: Jọnalụ Otu Jikọrọ Ndị ji Edemede Akwalite Asụsụ na Omenala Igbo, Alaka ya nke Naịjiriạ.* Awka: Igbo Scholars Forum. Vọl.. 1. Nọ.1, 112-131.

Nwẹya, G. O. (2018). The Igbo clause structure and the cartography of the complementiser phrase domain, Nchọcha PhD, Nnamdị Azịkiwe University, Awka.

Nwẹya, G. O. (2021) Articulated structure of the Igbo tense phrase domain. *Journal of West African Language.* Vọl. 48, Nọ. 2. 1-20.

Ouhalla, J. (1991). *Functional categories and parametric variation*. London: Routledge.

Radford, A. (2009). *Analysing English sentences: A minimalist approach.* New York: Cambridge University Press.

Taiwo, O. (2010) . Transformational grammar I. LIN 321. Ndetu ihe nkụzi, Mahadum Ibadan, Naịjiriạ.

## Yunit 4 Mgbanwerịta

**Ndịna**

1.0 Mkpọlite

2.0 Ebumnobi

3.0 Ndịna kpọm kwẹm

3.1 Mgbanwerịta

3.2 Ụdịdị mgbanwerịta

4.0 Mmechi

5.0 Nchịkọta

6.0 Ihe omume onye nkụzi ga-amaakị

7.0 Nrụmaka/ngụmi

### 1.0 Mkpọlite

N'ihe ọmụmụ a, a kọwara mgbanwerịta dị ka ụdị mgbanwe nke anọ pụtara ihe n'Igbo. Dị ka a kọwarala, akparamagwa asụsụ niile abụghị otu n'etu e si egosipụta mgbanwe dị iche iche. Na ntụlekọrịta asụsụ, ọ dị mkpa ịmata akparamagwa asụsụ ọ bụla dị ka o si metụta isi okwu a. Ya bụ na a ga-ahụ ka mgbanwerịta si apụta ihe n'asụsụ Igbo.

### 2.0 Mbunuche

Na ngwụcha nkụzi a, e bu n'obi na nwata akwụkwọ ga-enwe ike:

a. kọwaa mgbanwerịta dị ka ụdị mgbanwe e nwere n'Igbo.
b. jiri atụ zipụta etu mgbanwerịta si pụta ihe n'asụsụ Igbo.

### 3.0 Ndịna kpọm kwẹm

### 3.1 Mgbanwerịta

Nke a bụ ụdị mgbanwe a na-eji okwu na-adịbughi n'agba ala ahịrị okwu dochie ndị dịbu na ya. Nke a ga-eme na okwu e dochiri agaghị apụta ihe n'agba elu, ebe nke e jiri dochie ya ga-apụtazị. Ewumewu abụọ ziputere ụdị mgbanwe a bụ mmem nnọchị na mgbuda njikọ.

a. **Mmem nnọchi**: Nke a bụ ụzọ e si ewube nnọchi aha. Ọtụtụ oge, a na-eji nnọchi aha anọchite mkpọ aha ma ọ bụ aha ihe. N'ọnọdụ a, nnọchi aha ga-anọchite ihe ọ bụla mkpọ aha ahụ na-arụgara aka, d.k.

(1) (a) Agba ala: Ogbuu sị na Ogbuu jere ahịa
Ifeọma kwuru na Ifeọma zụtara ji

(b) Agba elu: Ogbuu sị na ya jere ahịa
Ifeọma kwuru na ya zụtara ji

N'atụ a, *ya* nọchitere anya *Ogbuu* na *Ifeọma* n'otu n'otu.

**Mgbuda Njikọ**

Nke a bụ ụdị mgbanwe a na-enwe oge e ji rịkọm ma ọ bụ kpọm rịkọm nọchite anya njikọ ndịnuju oge a na-emebe ahịrị okwu, ịma atụ

(2) (a) Agba ala: Oge butere oroma na ube na mangoro na ụdara na ọpapa

(a) Agba elu: Oge butere oroma, ube, mangoro, ụdara na ọpapa

N' ebe a, e jiri rịkọm wee nọchite anya njikọ anọ bu ụzọ. Atụ ndị a gosiri na ọtụtụ oge, mgbanwe na-etinyeso nghọta n'agba elu ahịrị okwu. Ya bụ na site na nkọwa ndị e nyerela, a ga-aghọta na oge a na-ewube agba ala n'atụtụ mgbanwe, na a na-etinye ihe ndị a n'ọrụ: ọdọnọ, iwu ntinye mkpụrụ okwu, iwu mbuda nkeji asụsụ na iwu ndokọ nkebi okwu. Ọ bụ ha ga-eme ka echiche pụta ihe n'agba ala.

## 5.0 Nchịkọta

Na nchịkọta, a kọwara na mgbanweṛita bụ iji ihe dịbu n'agba ala ahịrị okwu dochie ihe ọzọ n'agba elu ya ka nke dịbu ghara ịpụta ihe n'agba elu. Nke a pụtara ihe n'ụzọ abụọ gbara ọkpụrụkpụ: mmem nnọchị na mgbuda njikọ.

## 6.0 Ihe omume

Jiri atụ kọwaa mgbanweṛita n'uju.

## 7.0 Nrụmaka/ngụmi

Agbẹdọ, C. U. (2000). *General linguistics: An introductory reader.* Nsukka: ACE Resources.

Anagbọgụ, P. N., Mbah, B. M. & Eme, C. A. (2010). *Introduction to linguistics* (mbgh nke 2) Awka: Amaka.

Ikekeọnwụ C. I., Ezikeojiakụ, P. A., Ụbanị A. & Ugọjị, J (1999). *Fọnọloji na grama Igbo.* Ibadan: University Press.

Mbah, B. M. (1999). *Studies in syntax. Igbo phrase structure*. Nsukka: Prize Publishers

Mbah, B. M. (2011). *GB syntax: A minimalist theory and application to Igbo*. Cross River: Association of Nigerian Authors.

Mbah B. M, Mbah E. E (2014) *Atụmatụ amụmamụ asụsụ*. University of Nigeria Press Ltd.

Nwẹya, G. O. (2014). Igbo Grammar I. LII 221. Ndetu ihe nkụzi, Mahadum Ibadan, Naịjirịa.

Nwẹya, G. O. (2013). Mmetụta dị n'etiti usoro okwu na echiche. *Ekwe: Jọnalụ Otu Jikọrọ Ndị ji Edemede Akwalite Asụsụ na Omenala Igbo, Alaka ya nke Naịjirịa.* Awka: Igbo Scholars Forum. Vọl.. 1. Nọ.1, 112-131.

Nwẹya, G. O. (2018). The Igbo clause structure and the cartography of the complementiser phrase domain, Nchọcha PhD, Nnamdị Azịkiwe University, Awka.

Nwẹya, G. O. (2021) Articulated structure of the Igbo tense phrase domain. *Journal of West African languages.* Vọl. 48, Nọ. 2. 1-20.

Ouhalla, J. (1991). *Functional categories and parametric variation*. London: Routledge.

Radford, A. (2009). *Analysing English sentences: A minimalist approach.* New York: Cambridge University Press.

Taiwo, O. (2010) . Transformational grammar I. LIN 321. Ndetu ihe nkụzi, Mahadum Ibadan, Naịjirịa.